# Akwụkwọ Ozi Jemes

## Nkọwa Dị Mkpirikpi



**ZANE C. HODGES**

**JEMES**

**ZANE HODGES**

**OKWU MMALITE**

Akwụkwọ ozi Jemes onye ozi bụ nke si n'obi onye ozi nke chineke nke a haziri ma dee nke ọma n'usoro ndi Kraịst. Ụzọ o si dee ihe dị nkenke ma doo anya, na-eji ọtụtụ ihe atụ ndị dị irè eme ihe, na-eme ka ọ dị mfe ikwere na o jikwa ike dị ukwuu kụzie eziokwu Chineke n'ọnụ.

Ihe dị mkpa nke ihe odide ọgbaraọhụrụ nke kanọn, na ihe omimi nke dị n'akwụkwọ ozi ahụ mere ka ihe nchọpụta mbụ nke Luta ghọọ ihe na-abaghị uru maka ọrụ ahụ site n'ọdida nke ikuzi eziokwu n' ụzọ ziri ezi. Akwụkwọ ozi nke Jemes bụ olu nke sitere n'aka onye ndu ukwu nke Kraịst nke nghọta nke ihe ime mmụọ na nke ọdidi mmadu bụ nke kwekọrọ n'odide nke ọgbara ọhụrụ. chọọchi nke oge a na-eleghara ndụmọdụ Jemes bara uru nke ukwuu anya n'ihe ize ndu nke ya.

***Onye dere ya***

Odee kpọrọ onwe ya Jemes oru nke nwere ezi mmekọrịta nke chineke na nke onyenwe anyi Jizọs Kraịst. Mana olee Jemes nke a na-ekwu maka ya?

“Jemes” nke a na-ekwukari n'ime akwụkwọ ozi nke a bụ Jemes nke nne ji ya na Jisọs. Ọ bụrụ n'ezie na edere akwụkwọ ozi a mgbe Onyeozi Jemes nwụrụ (Lee mkparita ụka ahụ na ụbọchị). Nke a emeela ka o doo anya na ọ bụ Jemes nwanne onyenwe anyi bụ Jesus nke a maara nke ọma fọdụrụ na Chọọchị nke ndị Kraịst nọ na Palestine. Mgbe ahụ, ọ gaara adịrị ya mfe ịkpọ onwe ya n'ụzọ dị mfe na n'ụzọ dị umeala n'obi, “orù nke Chineke na nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, (1:1). O yikwara ka onye ahụ e degaara akwụkwọ ozi ahụ ọ̀ maara onye dere ya ma si otú ahụ na-agwa ndị e degaara ya n'ebe ọ bụla a gụrụ ya. Na mgbakwụnye, otú e si jiri ikike kwuo okwu n'akwụkwọ ozi ahụ na-egosi na ọ bụ onye a na-akwanyere ùgwù nke nwere ikike, ọ bụghị Jems a na-amaghị onye ọ bụ.

N'ihi ya ọ dịghị ihe ndabere siri ike iji wepụ ntule echiche ọdịnala nke bụ na onye dere ya bu Jemes nwanne Onyenwe anyị. N'ụzọ megidere nke ahụ, akwụkwọ ozi ahụ kwekọrọ n'ụzọ zuru ezu n'ihe ndị dị mkpa e kwuru banyere onye dere ya.

## Ndị na-ege ntị, Ụbọchị, na Ebe

Jemes kọwara ndị na-ege ya ntị dị ***ka ebo iri na abụọ ahụ*** (1:1). Nkea mere ka a mata na ndi nabatara ya na okwu ya bu ndi Juu. Ihe ndị mejuputara akwụkwọ ozi a nwere nkwekọ na nkea. Nkwuputa nke bụ na akwụkwọ ozi nke Jemes bụ ihe ndeko nke ndi Juu na-abụghị ndị Kraịst, bụkwanụ ebe e tinyere ihe ozizi ụfọdụ nke ndị Kraịst bụ nke e were ugbu a dika akụkọ na-emeghi eme ma ọ bụkwanụ akụkọ ifo. N'agbanyehi nke ahụ, Jemes ekwughi banyere ndị Jentile ma ọ bụkwanụ igosiputa udi ọbụla nke ozi ọma yiri nke ozi Pol jere. Nkea na eme ka amata n'eziokwu na edeela akwụkwọ Jemes tupu edekoo ihe niile banyere ndị Jentile n'akwụkwọ olu ndị ozi.

Ọ bụrụ na ngụkọ ọdinaala nke onwụ Jemes bụ (AD 62) ziri ezi, a garaghi ede akwụkwọ ozi mgbe nke ahụ gasiri. Kama, ebe a na-etinyeghi uche n'okwu ewelitere nke gbasara ndi Jentile a tọghatara atọghata nyekwuru aka ighọta na odide akwụkwọ ozi nke Jemes nwere ike ịbụ n'agbata ma ọ bu n'etiti nke (30s). Ọ bụrụ na agụọ abali atọ nke Eprel Oge anyi nke afọ iri ato na ato (33) dịka ụbọchị akpọgidere Jisus n'obe. Ọ ga-abụzi na mgbe atọghatara Sol nke Tasos (Pol) weere ọnọdụ na afọ (AD 34), Na-ahapụ otu afọ ma ọ bụ karia maka ihe omume ndị weere ọnọdụ n' (Olu Ndị Ozi 1-9).Ya bụrụ otu ahụ, akwkụwọ ozi Jemes ga-abụ n'eziokwu na e dere ya na ihe dika afọ AD34.

Ọ bụrụ na e were akwụkwọ Jemes dika ihe ederela ede tupu ezie ndi Jentile oziọma, Ọ ga-edozi mmadu anya na nkebiokwu a bụ -ebo iri na abụọ nke gbasara n'ebe nile n'usoro di mma nakwa n'ụzọ buru ibu. Okwu ndi a bu agbasara n'ebe nile sụgharịrị okwu Grik ndia bụ *en tê diaspora* nke pụtara – (igbasa n'ebe di iche iche nakwa n'ụzọ buru ibu).

Site n' idi na otu na nkwekọrịta nke di na Jerusalem ( Olu ndi ozi 4: 32-35) Ndị Kraịst oge mbụ bụ ndị gbasapụrụ rụọ Judia na Sameria. N'eziokwu n' akwụkwọ Olu Ndi Ozi 8:1 okwu ndi Bekee bụ - Ha bụ ndị gbasara - sụghariziri okwu bụ *diesparēsan,* bụ

nke sitere n' otu okwu Grik bụ *diaspora*. Ọ bụrụ na ọ bụ ndị a gbasasịrị agbasasị ka Jems degaara akwụkwọ ozi ya obere oge ka ha nwesịrị ahụmahụ a na-akpata nchekasị, otú onye dere ya si kwusie okwu ike banyere uru ọnwụnwa bara n'ụzọ ime mmụọ kwesịrị nnọọ ekwesị.

O nwere ike ibụ na e deela akwụkwọ ozi a tupu e zie ndi sameria ozi ọma mana ebe ndi sameria nwere mmekorita nke agburu n'ebe ndi Juu nọ, Ndị Kraịst oge mbụ gaara ele ndị Sameria ahụ a tọghatara anya dị ka ndị na - alọghachi n'òtù ime mmụọ nke ebo iri na abụọ ahụ bụ́ ndị mejupụtara ezi Izrel nke oge ahụ (lee Ndị Rom 2:28-29) Na Nlebara anya ziri ezi nke isi akwụkwọ Ọlụ ndị ozi gosiri na ndi kraist ahu anaghi ele Choochi anya dika ndi nọpụrụ onwe ha iche site n'ebe Isreal nọ mana nzube ma na agwaa. Ihe ọmụma ahụ gaje ịbịa mgbe e mesịrị site n'aka Pọl na ndịozi na ndị amụma ndị ọzọ dị nsọ nke Chọọchị oge mbụ (Ndị Efesọs 3:5).

Na mmechi n'ihi ya, akwụkwọ ozi nke Jemes bu akwụkwọ onye ozi degara ndi Juu kwere ekwe  a chusara achusa bụ ndi no na Palestine, ma eleghi anya o bu *tupu* ozioma mbu Pol ziri mba Jentile, ya bu ndi *Arabia* (Gal 1:17) Nke a na-ekwuputa ubochi nke AD 34 ma o bu 35. Na ntule uche di otu a. Jemes bu akwukwo ozi ebu uzo dee nke Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ. (Galatia bụ akwụkwọ ọzọ edere, ga-abụzi ihe dika AD 49)

**NZUBE**

Jemes na-edegara ndị Kraịst gbasasịrị (1:1) site na mkpagbu nke bilitere mgbe ọnwụ Stivin gasịrị. O yiri ka mkpagbu a ò belatawo ugbu a (lee Ọrụ Ndịozi 9:31). Obi abụọ adịghị ya na ncheta nke nsogbu ha nwere n'oge na-adịbeghị anya ka dị ọhụrụ n'uche ndị na-agụ akwụkwọ a. Mana, e nwere oge buru ibu gaferela maka nsogbu ohuru ipụta, ihe isi ike nke a kpatara pụtara ìhè na nsgobu otu nkwekọrita Chọọchi di icheiche na-enwe. Nsogbu ndi ahu bu: ilụ ọgụ, adighi n'otu na nkewa (4:1). Akwụkwọ ozi nke Jemes bu ndokwa e mere iji gbaa ndi kwere ekwe ume ka ha nwee ike iji okwukwe na nnogidesi ike guzogide onwunwa (5:7-8,10) na kwa ituteghachi mmuo nke udo n'etiti ndi nke Kraist (Choochi) (5:9).

Usoro odide akwụkwọ nke Jemes nyere aka ighota nzube oji dee ya n'uzo doro anya. Okwu agbamume ato nke di na Jemes 1:19 "ma ka madu ọ bula buru onye nānu ihe ọsọsọ, onye nādighi ngwa ikwu okwu, nādighi kwa ngwa iwe iwe:" N'eziokwu, O bu ya bu ihe kacha mkpa na akwụkwọ ya. Usoro Jemes webatara iji dee akwụkwọ ozi ya bu nke a maara ma kwado ya maka nkwupụta nke ihe odide nke ntughari uche ndi oge ochie dere. N'eziokwu, dika ihe Odide ntule echiche nke oge a na-egosipụta, Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ bu n'eziokwu ihe e dere maka iguputara ọhanaeze bu ndi no n'ime Choochi di iche iche. N'ihi ya, akwụkwọ ozi Jems bụ n'ezie okwu ma ọ bụ ozizi, nke e dere ede. Ndi bu isi no na akwụkwọ ozi bu: Ihu akwụkwọ ma o bu okwu mmalite (1:2-18) nke na-eso ya bu nkwuputa isiokwu (1:19-29): otu àhụ, nke ndị ọkà okwu Grik kpọrọ kephalaia, ma ọ bụ "ihebu isi" (headings) (1:21-5:6) na kwa okwu mmechi (5:7-20) Ihe ndeputa di n'okpuru ebe a gosiputara usoro nhazi a.

N'ihi atumatu ya ziri ezi di n'obi ihe bụ isi eji mere isiokwu nke di na 1:19-20 na-ekpughe nzube nke Jemes n'ihe odide ya nke edeputara ebe a.

IHE NDEPUTA

I. Ekele (1:1)

ii. Okwu Mmalite: zaghachi ọnwụnwa nke ọma (1:2-18)

a. Nabata onwụwa di iche iche (1:2-11)

b. E bokwala chineke ebubo (1:12-18)

iii. Isiokwu: Kpaa agwa di mma ma onwunwa bia (1:19-20)

iv. Ahụ: Zụlite Àgwà Dị Mkpa (1:21-5:6)

a. Nanu ihe ososo (1:21-2:26)

b. Adila ngwa ikwụ okwu (3:1-18)

c. Adila ngwa iwe iwe (4:1-5:6)

v. Okwu mmechi: itachiobi n' ọnwụnwa ruo n' ngwusi (5:7-20)

a. Ntachi obi nwere ezi ugwo orụ (5:7-11)

b. Ekpere nwere ike ịkwado Ntachi obi (5:12-20)

**NKWUPỤTA ECHICHE**

1. Ekele (1:1)

**1:1** Ọ ga-abụ Jemes, bṹ otu n'ime ụmụnne Jisọs, dere akwụkwọ ozi ahụ (lee Okwu Mmalite). Ọ bụ onye ndu ama ama na Choochi nke di na Jerusalem. Mana o chọghi utu aha nke a ga-eji na-ebuli ya elu, kama ọ kpọrọ onwe ya **oru nke chineke na nke Onye-new-any Jisus Kraist.** Agwa idi umeala n'obi a ka a choro n' aka mmadu o bula toro n' ezinaulo nke okpara Chineke na - enweghi mmehie.

Jemes na-agwa ndị na-ege ya ntị okwu, ndị ọ kpọrọ ***ebo iri na abụọ ahụ gbasasịrị agbasasị.*** O bụrụ na ọ bu ndi Juu bu ndị Kraist ka edegara akwụkwọ ozi n' oge na-eteghi aka ha gabigachara mkpaagbu nke mbu nke Choochi di na Jerusalem (c. AD 35; lee okwu mmalite). Ndi o na ekwu kpomkwem bu ndi Isreal kwere ekwe n'ezie n'etiti mba ndi Juu bara uba (tulee. Ndi Rom 2:28-29, 9:6-8)

ii. Okwu mmalite: zaghachi ọnwụnwa nke ọma (1:2-18)

A. Nabata onwụwa di iche iche (1:2-11)

**1: 2-4**. Jemes na-akpo ndi na-agu akwụkwo ya dika **umunna ya**, Ọ bughi n'ihi na ha bu ndi Juu ibe ya, kama o bụ maka na a muru ha site n'eluigwe, *Ọ were okwu nke ezi okwu muputa ayi,* (1:18; tulee olu ndiozi 9:30; 10:23 dgz). Okwu a bu umunna m o ji na-eme ihe jupụtara n' akwụkwọ ozi a (1:16,19; 2:1,5, 14; 3:1, 10,12;4:11; 5:7,9,10,12,19) Ọ bụrụ na mmadụ agụọ nanị n'elu elu ihe dị na 1:2-18, ọ ga-ahụ na onye dere ya lere ndị na-agụ ya anya dị ka Ndị Kraịst. A pụrụ ikwu na ọ dịghị ebe ọ bụla n'akwụkwọ ozi ahụ - ọbụnadị na 2:14-26 - o gosipụtara obi abụọ ọ bụla na ndị na-ege ya ntị bụ n'ezie ụmụnna ya ndị nwoke ma ọ bụ ndị nwanyị n'ime Onyenwe anyị.. Ọ buru na aghotaghi eziokwu a doro anya, o ga-eme ka mmadu banye na nsogbu nke itughari ihe na-edoghi anya ma obụ nke di mgbagwoju anya, dika otụtụ ndi mkpughe nke Jemes merela.

Mkpuruokwu ndi a bu **Guanu ya n'ọṅù nile** bu n'eziokwu mmepe nke okwu ndi di amaokwu nke 2 (na Grik). Ha n'egosi kpomkwem nkwụpụta ụdị mmeri ahụ Jemes chọrọ ka ụmụnna ya bṹ Ndị Kraịst nwee. Ha kwesiri ị na-anuri ọṅụ n'ime onwunwa

di iche iche ni'hi na onwunwa ndi a nwere nzube putara ìhè ma obu bara uru n'atumatu nke chineke. E kwukwara nzube ahụ ebe a dị ka ihe onye na-agụ ya maara. Nzube chineke nke o ji kwee ka a nwalee okwukwe bu iji miputa ntachi-obi, n'ụzo ziri ezi "Ndidi" ma ọ bụ "ntachi obi". O bụ ọrụ chineke izulite ma na-ewusi umu nwoke na nwanyi siri ike ndi ga-eguzosi ike n'okwukwe n'oge nsogbu ma ọ bụ n'oge ihe isi ike ma ghara ida mba.

Mana ndi kwere ekwe ekwesighi ibu ndi na-enweghi ndidi. Nke a bụ isi okwu nke amaokwu nke 4. mgbe Jemes na-agba ndi na-agu akwụkwọ ya ume ka "ndidi" (**ntachi-obi**) **luzue ọlu-ya**, ihe ọ putara bu na ha kwesiri ikwe ka onye nwe anyi mezuo ọlụ nke ntachiobi zuru ezu n'ime ha. N'eziokwu, *n' izuoke*, Jemes anaghi ekwu izu oke nke enweghi mmehie. Ma okwu Grik ndia bu **tozue okè dizu kwa nma,** putara otu ihe, ma e nwere ike ịsụgharị ha otú a: " ka unu wee zuo okè, bụrụkwa ndị a na-emerụghị emerụ, ndị ọ na-adịghị ihe ọ bụla kọrọ ha.

**1:5** Otu n'ime adịghị ike ndị nsogbu na-ekpughekarị bụ enweghị amamihe. "Ya mere, ọ bụrụ na "ntachi obi" ga-arụzu "ọrụ ya n'ụzọ zuru ezu", a ga-enwerịrị imeju enweghị amamihe dị n'ime ndị kwere ekwe. N'ezie, Jemes anaghi ekwu maka udi *amamihe* niile, ebe ọ bu na ndi kwere ekwe nwere ike inwe ọ̀tụtụ ebe ha na adighi ike ebe ha ka no na anu ahu. Kama, n' akwụkwọ ozi a, Jemes na-ekwu maka amamihe nke di mkpa na kwa nke achoro iji nagide ma guzogide ụdi di iche iche nke ọnwụnwa ha na enweta.

Ọ bụrụ na ọnwụnwa ekpughee enweghi amamihe n'otu akuku, gini ka onye kwere ekwe ga-eme? Jemes na aza na onye ahu kwesiri ikpe ekpere maka amamihe. Chineke nwere mmasi nke inye amamihe, ọ na-enye kwa ya n'uba **Riọ**, Jemes na-ekwughachi, **agawere kwa nye ya** (tulee. Matt 7:7; Luke 11:9)

**1:6** E nwere otu ihe a ga-emeriri. Otu o bụla o si di. Irio aririo maka amamihe bu nke a ga-emeriri site **n' okwukwe**. (v 6). Nke a pụtakwara na a ga-arioriri arịrịọ ***na-enweghị obi abụọ***. Okwukwe na obi abuo na - emegide onwe ha, Nke a bu eziokwu. Mgbe o bula mmadu nwere obi abụọ, ọ naghi ekwenye n'ihe a na ekwu. Mana, mgbe obula mmadu kwere n'ihe a na-ekwu, o naghi enwe obi abuo. (lee Matiu 14:31;

21:21; 28:17; Mak 11:23; Ndị Rom 14:23). Onye Kraist o bula rioro chineke maka amamihe ga -eme ya site n' idi nwayo nke obi ike n'ime onyenwe anyi. Ọ bụrụ na obi ya juputara n'obi abụọ banyere ịdị njikere Chineke ma obu ikike onwere imeli aririo ya, a ga - asi na onye Kraịst a **yiri ebili-miri nke oke osimiri mbe ifufe nefeghari ya, anatuli kwa ya elu** Nke bu na o jupụtara na enweghi ezi uche na ihe ga-eme nakwa akwughi otu ebe.

**1:7** Odida ya itukwasi Onye ọ na-abiakwute n'ekpere bu ihe siri ike. N'eziokwu, ọ bụ mkpari nye chineke n'onwe ya. Ka madu ahu ghara iche na **ọ gānata ihe ọ bula n'aka Onye-nwe-ayi**. Dika ndu ndi Kraist bidoro site na ntukwasi obi na ndu ebighebi bu site n'okwukwe na Kraist, ya mere mkpa onye kwere ekwe maka amamihe bụ nke o ga-arịọ Chineke site n'obi ike yiri nke a.

N'aka nke ozo, o gaghi abu ihe ga-ekwe omume na onye ahu ga atu anya na oga-aza aririo ya dika mgbukepu ìhè nke àmụmà, ozugbo o rioro ya. Nkwubi okwu nke a ga - eleghara ihe Jemes bu n'obi ebe a anya. Jemes ka kwupụtara na ebumnobi Chineke n'ọnwụnwa bụ inye ndị ahụ ihe ime mmụọ nke na-adịghị (v 3-4). N'ihi ya, mmadụ pụrụ ịtụ anya ka Chineke zaa ekpere o kpere maka amamihe site n'ọnwụnwa ahụ n'onwe ya, ka ọ na-atachi obi ruo mgbe a rụchara ọrụ zuru okè nke Chineke n'ime ya. Ekpere kwesịrị ekwesị pụrụ ịbụ, "Nna, nyere m aka inweta amamihe Ị chọrọ ka m nwee site n'ọnwụnwa a."

**1:8** Onye Kraist o bula nke na - agaghi ejili obike weputa obi ya ihapuru chineke mkpa ya maka amamihe bu **onye nādighi-eguzo n'otù ebe n'uzọ-ya nile.** O bu, n'ezie, **onye nwere uche abua** (dipsychos, mkpuru obi abụọ), udi nke ikewa "ọdịdị mmadu abụọ". n'akuku ahu ya nkea mara na okwesiri iji amamihe hapuru chineke mkpa ya, ebe akụkụ ya nke ọzọ na-enwe mmetuta na o ga egboriri mkpa ahu n' onwe ya. Ihe ndi na esi n'ime nkewa nke a aputa bụ agwa nke agbagoro agbago nke juputara n' njehie na mmalite na-ezighi ezi. Onye Kraịst nke jikotara enweghi amamihe na mmuo nke "obi abụọ nke Tọmọs bu onye isi ga-emehie ihe mgbe niile ma ọ bụ dika Jemes si kwuo ya. **onye nādighi-eguzo n'otù ebe n'uzọ-ya nile.**

**1:9** Olee otu **nwa-nna nke nọ n'ọnọdu di ala** ga-esi nabata onwunwa dị iche iche? (O nwere ike ịbụ na ihe Jems bu n'obi mgbe o kwuru "nwa-nna nke nọ n'ọnọdu di ala" bụ "nwanna dara ogbenye", ebe ọ bụ na e ji ya tụnyere ọgaranya [nwa-nna] ahụ e kwuru okwu ya n'amaokwu 10.) Ọ̀ bụ na Onye Kraịst nke nọ n'ọnọdụ dị ala ná ndụ

adịghị enwe nsogbu zuru ezu nanị n'ihi ọnọdụ ya? Olee otú nwanna nwoke dị otú ahụ pụrụ isi jiri obi iru ala, n'ezie jiri ọṅụ, nakwere ule ndị ọzọ na-abịakwasịkarị ya, karịsịa ndị na-esite n'eziokwu ahụ bụ́ na ọ bụ onye Kraịst? Otu Jemes si dozie okwu a di mfe. Nwanna ahu ga-ele onwunwa ndi biara ya dika **ihe 'mbuli elu.**

Ihe abuo mere ọ ga-eji mee ihe a bu n’ihi ihe e deputara n’odide na-esonu. Nke mbu, Chineke na-eleru nwanna di ala n’onudu ya site iji onwunwa di iche iche mee ka o ghoo onye kacha mma. (vv 3-4). O nweghi ihe ùgwù kariri mmadu ibu onye chineke meere amara nakwa onye o hụrụ.n’anya. Chineke na-akwadebekwa inye nwanna a ***okpueze nke ndụ***, bụ́ nke na-abịara ndị na-atachi obi n'ọnwụnwa (amaokwu nke 12 na ntụle). Nke ahụ bụkwa mbuli elu. N'ihi ya, e nwere ike ibuli nwanna nke no n’ onodu di ala elu (n'oge ọnwụnwa ahụ) nakwa n'ọdịnihu (n'ihe ga-esi n'ọnwụnwa ahụ pụta). Ya mere, nke a kwesịrị ịbụ otú onye ogbenye si ele nsogbu anya.

**1:10**. Ọnọdụ nwanna nwoke ahụ bara **ọgaranya** dị iche. Nwanna nwoke bụ́ onye Kraịst nke bara ọgaranya kwesịrị **ịnya isi** (nke a pụtakwara site n'amaokwu nke 9) n'ọnwụnwa onwe onye ya dị ka ụdị nke ***mmechu ihu***. Dịka ndị nile nwere ihe onwunwe n'ụba, Onye Kraịst bara ọgaranya pụrụ ichefu n'ụzọ dị mfe na **dika uzari ahihia** na **ọ** ga **agāgabiga**.

Otú ọ dị, Chineke pụrụ iji ọnwụnwa mee ihe iji chetara ya ịdị mkpụmkpụ nke ndụ elu ala ya na otú ihe onwunwe ya nile pụrụ isi funahụ ya ngwa ngwa (Luk 12:18-21). O kwesịrị ịṅụrị ọṅụ n'ahụhụ ya n'ihi na ha na-eweda ya ala nakwa n'ihi na, ka e kwuwe, ọ bụ mmadụ nkịtị, onye ndụ ya bụ "***uzuoku nke na-apụta ruo nwa oge ma pụọ n'anya"*** (Jems 4:14).

**1:11** Iji mesie ihe ọ na-ekwu ike, Jemes ji ọgaranya ahụ tụnyere ahịhịa nkịtị nke ahịhịa ya **na-akpọnwụ** n’oge okpomọkụ. Nchụso ya ga-akwụsị na mberede ma ọ nwụọ. Onye Kraịst bara ọgaranya pụrụ iwepụta oge ná nsogbu ya iji cheta ihe a nile.

*B. E bokwala chineke ebubo (1:12-18)*

**1:12**. N'ebe a, Jemes malitere akụkụ nke abụọ nke okwu mmalite ya. Onye na-agbaso àgwà ahụ Jemes tụrụ aro ya n'amaokwu nke 2-11, **nātachi obi n'ọnwunwa** (*peirasmos*; otu okwu ahụ a sụgharịrị ọnwụnwa n'amaokwu nke 2) ma nwee ike ịtụ anya ụgwọ ọrụ. A ga-anwale ndị kwere ekwe site n'ịtachi obi. N'iji okwu ahụ gosipụtara (*dokimos*) mee ihe, Jemes na-adọrọ uche gaa n'ịzụlite àgwà nke ọ kpọtụrụ aha na vv 2-4 (lee. Ndị Rom 5:3-4a). Chineke na-agọzi n'ezie Onye Kraịst nke ntachi obi ya n'ọnwụnwa rụpụtara àgwà a nwapụtara anwapụta (*dokimēn*).

ihe mere o ji bụrụ onye agoziri agozi bu na (ebe ọ bụ onye anwaputara) **ọ ga-enweta okpueze nke bu ndụ**. Ajụjụ na ebilite ebe a bụ **okpueze nke ndu** nke Jemes na-ekwu okwu ya, ọ bụ ugwọ oru nke ugbu a, ma o bu nke odiniihu. Echiche nke ọ bụla nwere ike ịbụ eziokwu, ma ndụ ahụ a na-ekwu okwu ya ekwesịghị ịdị mgbagwoju anya n'onyinye ndụ ahụ e nyere n'efu nke Jems kpọtụrụ aha n'oge na-adịghị anya.(vv 17-18; tulee Rom 6:23; Rev 22:17 dgz.).  O doro anya na amaokwu 12 na-ekwu banyere ụgwọ ọrụ anyị ga-enweta ma ọ bụrụ na anyị edie ọnwụnwa.

Ọ bụrụ na a na-ekwu banyere ụgwọ ọrụ a ga-enweta n'ọdịnihu, amaokwu yiri nke ahụ pụrụ ịbụ Ndị Galeshia 6:8, bụ́ ebe e kwuru na "ihe ubi" nke onye kwere ekwe ga-enweta n'ọdịnihu bụ ndụ ebighị ebi. N’agbanyehi ya, ndu ebighi ebi bu ihe enwetara na mbu dika onyinye, n’ikike nke inweta ya n’uba (Jọn 10:10) bu nke enyefere n’ aka ndi na-eso Kraist na-erube isi.

O yikarịrị ka Jems ọ̀ na-eche banyere ụzọ Chineke si eme ka ahụmahụ mmadụ nwere ná ndụ ugbu a ka mma, mgbe ntachi obi ruzuru oru ya n’uzo gara nke ọma.

Nkọwa a yiri ka ọ bụ eziokwu nke ukwuu n'ihi ihe Jemes kwuru n’isi nke 5:11. N’eziokwu okwu a nwelitere otụtụ isiokwu nke 1:3-12 nke gunyere ntụaka bụ "onye agọziri agozi" (1:12) na okwu ahụ: ‘ịkpọ ha ndị a gọziri agọzi’ (5:11). Onye Juu o bula bu onye na-eso Jisus nke na-agu akwụkwọ Jemes ga-amata otu chineke si gozie ndu Job site na ngozi di iche iche mgbe o tachisiri obi n’onwunwa ndi biara ya.  N’ihi ya, ọ na-eyi ka ihe Jemes bu n’obi na-ekwu maka "okpueze nke ndu" bụ ọnọdu nke ahumahu nke na-adi obere nke ndu. (n'ụzọ ime mmụọ mgbe nile, n'ụzọ ihe nke uwa mgbe ụfọdụ)

N’ikpeazu, ahumahu nke a bụ maka **ndi huru Ya n'anya.** Ọ bụ naani ndi a ka Chineke kwere nkwa maka *okpueze nke ndu*. N’eziokwu, ekwesiri ikwuputa na ọnwunwa di iche iche onye kwere ekwe na-agabiga n’ uzo ụfọdu ma ọbụ n’ ụzọ bụ nwapụta ihụnanya ha nwere maka chineke. N’ ime ule nke ọ bụla biaranụ, ọnwụnwa nke iju ime iwu chineke na-abia site n’izilaga ma o bu izighachi onwunwa ahu bụ nke ga-egbochi ọrụ nwuli elu nke agwa nke chineke na-arụ n’ime ndi niile doro onwe ha n’ okpuru aka di ike nke chineke iji nweta "okpueze nke bu ndu"

**1:13** Na' nkwubi okwu nke okwu mmalite ya, Jemes mere ka ihe ọ na-ekwu doo anya site n’ iji okwu bụ *peirasmos* mee ihe site na nkọwa sara mbara nke bu "ọnwụnwa" ma ọ bụ "Ule"(vv 2-12) n’ụzọ pụtara ìhè nke bụ "ọnwụnwa" ma ọbụ njikere maka ihe ọjọọ". N’ onwụwa ọ bụla (n’echiche sara mbara), E nwere "ọnwụnwa" nke ihe ọjọọ (n’ echiche nke ntakiri ma ọbụ obere).

Onye nke na-ekwuputa "**a na-esite n’ aka chineke anwam**" echefuola na **chineke bụ onye anapugh iwere ihe ọjọ nwa ya**. Kama nke ahụ, isi iyi nke ọnwụnwa bụ mkpali ime mmụọ nke ọchịchọ [ọjọọ] nke onwe na-akpa. A sị na ndị mmadụ abụghị ndị ajọ omume, ha agaraghị enwe ọchịchọ dị otú ahụ, ha agaghịkwa enwe mmetụta na-ezighị ezi.

Ọ bụrụ na chineke bụ onye anapugh iwere ihe ọjọ nwa ya, O ga na - eju ụfọdụ ndi anya otu Jisus di. N’ ezie, Jisus bu mmadu mgbe ọ nọ n'uwa. O zuru oke ma dị nsọ mana o nweghi ọdịdị nke mmehie. N’ agbanyehi ya, ọ bụ na anụ ahụ ka setan nwara ya ọnwụnwa o bụghi na mmụo.

**1:14** N' uzo doro anya n' ihe ọdide a Jemes na-eche banyere ọnwụnwa n' ikwupụta echiche nke ya. Mgbali niile Satan na-eme ka o duba ndi mmadu n' ihe ọjọọ nakwa n' ihe nrafu niile nke uwa agaghị enwe mmetụta n'ebe mmadụ nọ, **ọ gwụla ma mgbe agu ihe ọjọọ nke aka ya na nadokpufu ya ewe rafue ya**. Ọnwụnwa na-abiara mmadu naani mgbe ọ na-ele ihe ọjọọ anya dika ihe a na-chọsị ike n’ ụzọ ụfọdụ.

Jemes na-ekwuputa na chineke anaghi anwa ọnye ọ  bụla. Nke a putara na chineke *n' onwe ya* abụghị onye ozi ma ọbụ ngwa ọrụ nke ọnwụnwa; mana okwu Jemes na - enyere anyi aka ighọta eziokwu bụ na Chineke *na-ekwe ka* ọnwụnwa biara ndi mmadu. Job bu ihe atụ bụ isi. Chineke *n'onwe ya* abụghi ya nwara Job mana chineke *kwere ka* Setan nwaa Job.

N'ihi ya, ndị na-agụ akwụkwọ ozi Jemes ekwesịghị ịta Chineke ụta maka ọnwụnwa ndị bịaara ha. Kama nke ahụ, ọ bụ ha ka ụta dịịrị n'ihi obi ọjọọ ha.

**1:15** Ugbu a, Jemes ji nlezianya chọputa agwa nwụrụ anwụ na ọghom nke ochicho ọjọọ nke mmadu ga-eduba ya. Asụsụ o webatara bu asụsụ nke omụmụ nwa. **Ọchịcho** (dika ọ bụrụ na nwanyi) na-enwe ahụmahu nke ịtụrụ ime ma mechaa **mụọ nwa** (*tiktei*) **n' ebe mmehie di.**

Ọchịchọ, Jemes kwuru, bụ nne nke mmehie. Udi itụrụ ime a na-aputa ihe mgbe ọchịcho ma ọbụ agụụ na-ezighi ezi jikotara ọnụ site n'uche mmadụ. Nke a bụzi na omụmụ nke mmehie ghoziri mkpebi nke obi. Mana, Mgbe ahụ mmehie tụsịrị ime site n'agụụ ihe ọjọọ, ọ na-eto (ma ọbụ meghachi) ruo ntozu oke (ya bu **itozu etozu**). Mgbe ahụ, mmehie n'onwe ya na-amụpụta nwa nke aka ya: aha ya bụ **-onwụ** (mmehie na-eweta [apokyeo, " na-amuputa nwa nke"] ọnwụ).

ọnwụ, bụ n' ezie nwa nwa nke mmehie na agụụ ihe ọjọọ ma ọ bụ ọchịchọ. Ọnwụ bụ ụzọ na-enweghị isi nke agụụ mmadụ nwere ike iduba ya. Nkwubi okwụ a ka e kwuahachiri site na Jemes nke di na 5:20. Eziokwu a bụ na ọnwụ nke anụ ahụ bụ ngwụsi ikpeazu nke agwa nke mmehie bụ nke e kwughachiri mgbe niile n'akwukwo nke Ilu (ihe atụ., 10:27; 11:19; 12:28; 13:14; 19:16). Ebe ọ bu na Jemes na-edegara ụmụnna ya bu ndi na-eso ụzọ Jisus akwụkwọ ọzi (lee ọkwu nke Jemes 1:2), o doro anya na Onye Kraịst a mụrụ ọzọ nwedịrị ike ịnwụ ọnwụ ike site n'ime ihe na - agụ anụ ahụ̣ ya agụụ. Nke a bụ echiche dị oke mkpa. Ma nchegharị ozugbo site ná mmehie, ya bụ, isi n'ụzọ ya hiere ụzọ chigharịa (5:20), pụrụ iwepụ mmehie ahụ tupu ya etoo ma si otú ahụ zọpụta onye mmehie ahụ n'ọnwụ.

**1:16** N'ihi ya, umunne ndi nwoke na ndi nwanyi bu ndi na-eso uzo Jisus ekwesighi ikwe ka ha buru ndi **e duhiere.** Onwụnwa nke mmehie na-eduga n'ọnwụ nke anụ

ahụ, ọnwụ bukwanụ okwu azụ nke ụdiri onyinye chineke na-enye mgbe niile. N' eziokwu, ọnwụ bu ihe ọghọm jọrọ njọ nke a na-enweta site na mmehie (Rom 6:23). Mana Chineke bụ ọnye onyinye gbapụtara ihe nke ukwụụ

**1:17** N'eziokwu, ọ bụ onye na-enye onyinye nke zuru oke; na-adighi ka ndi na-enye onyinye nke ụwa a. **Ezi onyinye ọ bula n'onyinye ọ bụla zuru oke** si n'aka ya bịa nihi ya, **O si n' elu**. Mmadu nwere ike iche na Jemes kwesiri ikwu na Chineke na-enye naani *ezi onyinye na onyinye zuru oke*; mana n' eziokwu, Jemes kwuru karia otu ahu. Ebe ọ bụla e nwere ụdi ihe dị otu a dịka onyinye zuru oke, Onyinye ahu nke bara uru sitere *n'elu*. N'ụzọ dị iche na nke ahụ, onyinye nile sitere n'aka mmadụ nwere ntụpọ n'ụzọ ụfọdụ n'ihi na onye nyere ya ezughị okè.. Naani Chineke bụ onye ga-enyeli onyinye nile zuru oke. Ọbụ n'ihi na ọ bụ **Nna nke ìhè, Onye ọghugha ọ bula nāpughi idi n'ebe Ọ nọ, ma-ọbu onyinyo nke nchighari nēweta**.

**1:18**, Onye nke kraist kwesiri imara eziokwu a (4:17) Nke kacha mma na ha niile bụ na *ndi niile* na-agụ akwụkwọ Jemes bụ ndi na-eso uzo Jisus. Ebe o di ọtu a, Jemes nwere ike ikwu maka ha nakwa onwe ya. **O bụ site n' uche nke aka ya ka o mụpụtara anyi,** ya bụ- ọ bụ ya "mụpụtara" anyi.

Nkwubi okwu a nwere njiko doro anya n'ihe odide a. Okwu Jemes *bụ a mụpụtara anyi* (apokyeo) bukwa otu okwu ahụ e ji mee ihe na v 15 bụ "*O wee mụpụta*. Mmehie, Jemes na-ekwu "o wee mụpụta onwụ, mana chineke na-amu ọmụmụ nke ndi kwere ekwe. N'aka nke ọzọ, ọ bughi nke jikotara n' uche nke mmadu, o gaara abu nke mmerụ di na ya n'ihi ihe ọjọọ nke "uche ahu". Kama, ọmumu ọhụrụ na-achota isi mbido ya n' uche Chineke (*ya bu uche nke onwe ya*) ma bụrụkwa nke metụtara okwu **nke eziokwu**.

Ihe Chineke na-aruzụ n'ịgbanwe mmadu bu nke enwere ike ikọwa dika mkpughe. Dika-*agwa nke uche ya*. O na-enye ìhè nke ozioma iwu iji banye n'obi mmadụ ka o wee nwee ike ịhụ ìhè ahụ n'okwukwe, dị ka Jizọs gwara Pita mgbe o kwupụtasịrị mmehie ya (Matt 16:17). Nke a n'eziokwu enweghi ụzọ o bụla o si ewetu ikike mmadu nwere ichọ Chineke na ìhè nke ọ bu naani ya nwere ike inye (Ọlu ndi ozi 17:26-27; Heb 11:6).

N'ezie, nkuzi nke akpọrọ “nzọpụta nke dabere na iwu” (Lordship Salvation) rụrụ arụ site n'ikwuputa na okwukwe na-azọpụta bụ agwa nke uche, ọ na-emebi echiche Akwụkwọ Nsọ banyere okwukwe dị ka ịnabata eziokwu nke Chineke. okwukwe na-azọpụta nke baibul bu nkwenye ma obu mkpali banyere ihe Chineke kwuru n’ozi oma (Rom 4:21) E nweghị ebe uche mmadụ dị n'ebe a, ọbụnadị mgbe mmụọ Chineke na-eduzi ya.. Chineke nyere ìhè nke ọkwụ ya iwu ka o nwuo n’ime obi mmadu ma dika ụmụ nwoke kpuru isi na-enweghi ike ihụ uzo na mberede, o nabatara ya dika eziokwu (2 Kon 4;6). Ozugbo e nwetara ya ka eziokwu, nke bụ ekwetara, e nweghizi uzo maka uche mmadu ime. Okwukwe na nnọghari ohụrụ aburụla nke were ọnodụ.

Ihe ga-esi n’ime agwa di ịtụnanya nke uche chineke na okwu ya pụta bu, na anyi bu ndi amuru ọzo ga-abu **udi nke mkpuru mbu nke ihe okike ya**. Nsughari nke NKJV na **anyi nwere ike ibu**, bu ihe na-edochaghị anya dika ọ di na ihe odide Grik mbu nochibidoro ya (*eis to einai)*. Nkebiokwu nke Grik a nwere ike ikwuputa *nzube ma obu ihesi na ya pụta*. O bụrụ na echiche a bụ nke nzube, Jemes ga na-ekwuputa si " Chineke emeela ka anyị dịghachi ndụ ka anyị wee nwee ike ịbụ (ịghọ)...” ma ọ bụrụ na echiche a bu "ihe sina ya puta", mgbe ahụ okwu ndị a na-atụ aro, “Chineke emeela ka anyị dịghachi ọhụrụ ka anyị wee bụrụ (ugbu a) ụdị mkpụrụ mbụ...” Echiche Nke ugbua yiri ka ọ bụ ihe ebumpụta ụwa ebe ọ na-enye njikọ n'okwu Jemes site n'ime ka o doo anya ihe onye kwere ekwe bụ n'ihi ọrụ mmeghari nke Chineke.

Ihe Jemes na-ekwu bu na onyinye Chineke nke ndu ohuru bu nke *di nnọọ mma* ma zuo oke nke bu mgbe mmadụ nwere ndụ ahụ, ọ bụ ihe na-egosiputa ihe Chineke ga-emere ihe niile o kere eke (Ihe niile ekere eke).

Dika mkpuru mbu nke si n’ubi (mkpuru mbu) na-egosiputa otu odidi nke owuwe ihe ubi n'ozuzu ya, otu ahu ka ọrụ ebube nke mmeghari si di egwu nke bụ ihe Chineke zubere maka ihe niile ekere eke ga-abukwa nke e nwere ike ikpọ *ndi amuru ozo* (Matt 19:28). Ọ bụ ezie na Jems kwetara na ihe atụ ahụ abụghị kpọmkwem (Ndi kwere ekwe bụ udi nke mkpuru mbụ) mana ọ na-ekwuputa echiche ya n’ụzo di mma.

e nweghi mmerụ di na onyinye nke ndụ ọhụrụ, ma O bughi ya ọ gaara a dịka enweghi eziokwu di n'usoro nke ihe chineke chọrọ imere ihe niile o kere eke.

III. Isiokwu: Kpaa Agwa Di Mma Ma Onwunwa Bia (1:19-20)

**1:19** Ugbu a Jemes na-ekwuputa aziza ya n' ebe ajuju nke otu a ga esi na-akpa agwa mgbe onodu siri ike biara. Okwu a n'ezie gosiri njiko nke ihe ndi o kwurula ekwu. Enwere ihe mmuta nke nkwuputa okwu di na amaokwu 19-20 bụzi isiokwu nke akwụkwọ ozi ahu niile. Ọ bu ezie na ndumọdụ di mma maka oge niile nakwa ọnọdụ niile. Nwulielu ndi nwere ọnodụ nkweko pụrụ iche maka ndi na-agabiga ọnwunwa na nnwale. Okwu agbamume ya di atọ.

Nke mbụ, **na-anụ ihe ọsọsọ**. Ọchịchọ ziri ezi nke ige nti nke ọma bu ihe nkwado di mma iji nwee ntachiobi gara nke ọma n' okpuru nnwale. N'ezie, a chọrọ ụdi agwa a mgbe niile, mana, mgbe onye kwere ekwe na-agabiga nsogbu, Ọ gacho ime ngwa ngwa gee ntị na amamihe nke chineke na-enye site n'okwu ya ma ọbụ site na ndụmọdu nke ndi ọzọ bụ nke dabere n'okwu ahụ.

Mana Ndi mmadụ na-enwekari mkpali nke ikwu ọkwu n'oge nsogbu karia ige nti. N'ihi ya, Ndụmọdu nke abụọ bụ, ịbụ onye na-adịghị **ngwa ikwu okwu**. Mkpali nke mmadu ikwuputa echiche na mmetụta ya mgbe ọ nọ na ọnwụnwa kwesiri ibụ nke achịkwara, achikwa. Dika, a na-ekwukari mgbe niile, mmadu agaghi amụtali ihe mgbe ọ ka na-ekwu okwụ, Ị E nwere ike ikwupụta na mmeri Job meriri ọnwunwa bu nke e gosiputara n' okwu ya di nkenke ma nwee ezi ihe mmuta nke dị na Job 1 and 2 (1:21; 2:10). Ọ bụ naanị mgbe o kpebiri itinye onwe ya n'ogologo nkwurita okwu nke ndi a kporo ndi enyi ya mere ka mputa ìhè nke mmeri ya ne ebe onwụnwa dị bụrụ nke a gwakọrọ agwakọ. Ọ kwesiri ibụ agwa dị mma maka onye ọ bụla n' okpuru nsogbu imechi ọnụ ya, ya bu, i bụ onye na-adighi *ekwu okwu ngwa ngwa*.

Ndụmọdụ nke ato bụ - ịbụ onye **na-adighị kwa ngwa iwe iwe**. Onye ọ bụla maara na *iwe* (*orgē* "anger") bụ otu n'ime mmeghachi omume ụmụ mmadụ na-enwekarị n'oge ihe isi ike. Obi mmadụ na-agbagakarị ngwa ngwa n'iwe site n'ihe omume na-ezighi ezi. Mgbe ahụ ndi mmadu amalite ịta ndị ọzọ ma ọbụdị Chineke ụta maka

nsogbu ha. N’ eziokwu, ikike nke izere iwe n’ụdị oge ndị a bụ agwa nke a na-achosi ike.

**1:20** Ma mgbochi dị otú ahụ abụghị nanị ihe na-adọrọ mmasị; ọ na-arụkwa ọrụ. Maka, Jemes na-agbakwụnye, **n’ihi na iwe madu adighi-alu ọlu ezi omume Chineke.** Ihe mgbarụ ọsọ bụ isi nke ọnye Kraist na-agabiga ọnwụnwa bụ inwe nghota *nke eziomume* chineke na ndụ ya. Ihe iga nke ọma mmadụ ga-enweta site n’ ọnwụnwa dị iche iche (cf. vv 2-4) bụ na ihe ngụkọ nke ikpeazu nke uto n’ime eziomume na ikpa agwa ka Chineke.

Amaokwu 19-20 Mechiri okwu mmalite ma kowakwuo ihe ndi bu isi mejuputara akwụkwọ ozi Jemes. Ihe bu isi nke akwụkwọ ozi nke Jemes bu nnwale: Isiokwu ya bu agwa ziri ezi n’okpuru ọnwụnwa. Udị omume a - gunyere inwe ochicho nke ige nti, igbara ikwu okwu ngwa ngwa na mgbochi n’ebe igosiputa iwe dị.

IV. Ahụ: Zụlite Àgwà Dị Mkpa (1:21-5:6)

A. *Bụrụ onye na-anu ihe ọsọsọ* (1:21-2:26)

(1) Ọ karịrị naani ige nti (1:21-27)

**1:21**. Ugbu a, isiokwu nke ozioma a abụrụla nke a chikotarala site n’aka Jemes (vv 19-20), O banyeziri n'ime nkowa miri emi na nke sara mbara nke isiokwu ya. Okwu ahụ **N’ihi nke a**, (*dio*) na-egosi ebe ọhụrụ a ga-esi malite. O zụghi ezu maka onye na-ede akwụkwọ ikwupụta naani ihe a chọrọ na nke 19. O ga-ebuririụzọ tulee nkwekọ ya dị iche iche. Otu onye na -agu ya nwere ike ikwu si N’eziokwu, A na m adi ngwa n’ịnụ okwu chineke. Mana mkpughe okwu Jemes tinyere nkwupụta okwu a n’ule.

Onye kwere ekwe nke choro **inara**... **okwu ahu nke akuworo** ga-adiriri njikere. N’uzo na-ezighi ezi na n’uzo ziri ezi. N’uzo na-ezighi ezi, **o kwesiri itupu inyi nile na njubiga-oke nile nke ihe ọjọ.** N’uzo ziri ezi, O kwesiri inara (ma ọbụ "nabata" [*dextasthe*]) Okwu ahu site n’ **obi nwayo**

Nkwadebe dị mkpa maka 'ịnụ' Okwu ahụ bụ mmadụ ịhapụ ihe ọjọọ. Okwu ahụ a sụgharịrị bụ *hapụ* (*apotithemi*) bụ nke ejirila mee ihe nke iyipu uwe oyiyi. Ihe ọjọọ n'onwe ya ka a kowara dika inyi nile na dika njubiga-oke nile nke ihe ọjọ**.** - Jemes kpọrọ "ihe ọjọọ" ntolite na-ezighi ezi na ndụ Onye Kraịst.

Dika mkpụrụ akuworo n'ime ha, okwu ahụ etinyela ndụ ọhụrụ n' ime ha. Ọ bụ n'ezie okwu "nmụpụta" bu nke sitera n'okike ma bụrụ nke etinyere n'ime ha dịka ndị a mụrụ ọzọ (Lee otú Pita si jiri ihe atụ nke mkpụrụ mee ihe maka ịmụ mmadụ ọzọ na 1 Pita 1:23-25.) Dika mkpụrụ nke oka nwezụrụ n'ime onwe ya ihe ndi ziri ezi nke oka kwesiri inwe iji too, otu ahụ ka ọ dị oziọma a. Ọ bụ ezie na ozi nke nzọpụta dị mfe, mkpụrụ nke ndụ nke a kụrụ mgbe anyị kwenyere na ozi a nwere ikike dị ukwuu nke ọ bụ nanị nrubeisi Ndị Kraịst pụrụ ịzụlite n'ụzọ zuru ezu.

N'iga n'ihu, *Okwu ahu nke akuworo* nwere ike ịmịpụta ihe bara uru nke ukwuu, maka Jemes gwara ndi na agu akwukwo ya na **Ọ puru izọputa nkpuru-obi-unu**.

Ọtụtụ ndị na-agụ akwụkwọ ya na ndi nkọwapụta ya meghachịrị omume n'egbughi oge na nkebi okwu a *bụ ịzọpụta mkpụrụ obi unu* [save your souls] n'asụsụ Bekee, Nke dugara ha ighọta, na ọ bụ nzọpụta ebighi ebi site n'oku ala mmụọ. mana, e nweghi onye n'ime ndị na-agu akwukwọ Jemes nwere ike iwepụta ihe okwu a pụtara site n'ihe odide a. Nkebi okwu Grik nke a hụrụ ebe a (sōsai tas psychas hymōn) bu nke ejirila mee ihe n'echiche nke bu "izọpụta ndụ." E ji ya mee ịhe na Grik ochie n'otu mgbe ahu nakwa Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ -Grik ọhụrụ n' otu echiche ahụ. (Lee Jen 19:17; 32:30) 1 Sam 19:11; Jer 48:6 Mark 3:4 Luk 6:9). Nke a bu n'ezie echiche nke ziri ezi nke dị na Jemes 5:20, bụ nke na-arụ aka na nchekwa ndụ n'ụzọ anụ ahụ site n'ọnwụ. O nweghi ebe n'ime Grik Baịbụl niile (nke bụ Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ tinyere na Septuagint, nsughari nke Grik nke ochie) ebe nkebiokwu a na-egosipụta nnapụta site n'ọkụ ala mmụọ. (Maka okwu mbụrụ nke onyenwe anyi iji nkebiokwu a mee ihe, lee ntụle dị na Matt 16:24-28; Mark 8:34-38; Luk 9:23-27.)

Mpụtara okwu a bụ nke ihe ndeko kwadoro - "izoputa ndu unu niile" - — bụ kpọmkwem ihe ọ pụtara kacha dabara na nke a. Ndi na-agu, akwụkwọ a aburula ndi amụrụla ọzọ (v 18) Ọ dịghịkwa mkpa ka a zọpụta ha na oku ala mmụọ. Na ntukwasi,

Jemes ekwuola ihe oghom mmehie nke ọnwụ na-akpata. (vv 14-15). Na echieche a, ihe mpụtara nke amaokwụ 21 doro anya: O bụ ezie na mmehie nwere ike iduje n'onwu nke anụ ahụ, okwu nke Chineke, nke anabatara n'idi mma, ga-echekwali ndụ nke anụ ahụ(tulee. Ilu 10:27, 11:19; 12:28; 13:14; 19:16).

Site n'echiche nke asụsụ na nke ihe ndị gbara ya gburugburu, nakwa site n'echiche nke amamihe ndị Hibru, a pụghị inwe obi abụọ ọ bụla ziri ezi banyere ihe Jems bu n'uche n'amaokwu a. Iwere okwu ndị a dịka ntụaka maka nzọpụta ebighi ebi bụ imehie ihe doro anya nke Ịkowa Akwụkwọ Nsọ n'ụzọ na-ezighi ezi site n'echiche onwe onye [eisegesis na okwu bekee]. Ọ bụrụ na onye na-agụ akwụkwọ ozi a na-eme nke ahụ n'amaokwu nke 21, ọ bụghị nanị na ọ ga-aghọtahie amaokwu ahụ n'onwe ya, kama ọ ga-aghọtahie akwụkwọ ozi ahụ dum, gụnyere 2:14-26!

**1: 22.** Dịka ọ dị mkpa inweta *okwu ahu nke akuworo* site n'obi di ọcha na mmụọ dị nwayọọ, ọ nweziri otu nzoụkwụ ụzo di mkpa. Ha ga abụrịrị **ndi neme okwu ahu.**

Ndị na agụ akwụkwọ Jemes ekwesighi ikwe kaha bụrụ ndị na - - **añu naani**; kama ha ga - egerịrị ya nti. Jemes na-agbakwasị ụkwụ n'isi ihe bu na okwu a bụ "nụrụ" mana Hibru na Grik nwere ike ipụta n'echiche nke "inụta ihe" ma ọbụ "inụ ihe otu kwesiri ekwesi". Nke bụ "irube isi". Na nkwupụta nke iwu bụ, bụrụ onye *na-anụ ihe ososo* (v 19); Jemes chọrọ ka ndi na-ege ya nti ghota na ina-anụ okwu chineke mgbe niile na nzụkọ niile nke chọọchi abụghi, ihe niile o bu n'obi. "*Bụrụ ọnye na añụ ihe ososo*, n'ụzọ miri emi pụtara "ibụ onye dị ngwa irube isi. Ọ bụrụ na ndị na-agu, akwụkwọ ya echee na ọ bụ naani ige nti n'akwụkwọ nso ezuola, Ha dara ya ada. N'ihi nkwenye a, Ha ga na- **aghọgbu** onwe ha. Ihe ngụzi nke taa ga-abu onye kraist nke jupụtara na nkwupụta na omụmu nke okwu chineke mana ya buru onye na-etinyechaghị nke ọ bụla n'ime ya n'ime ndụ ya kwa ụbọchị.

**1:23** Jemes na ekwuputa ihe bụ isi bụ ịnụ okwu ma ghara ime ya dika ile anya n'ime enyo ma chefuo ihe onye ahụ hụrụ.

Ihe a na-ahu n'enyo a bu nke akowara site n'aka Jemes dika **iru ọ nwere mbe amuputara ya** (*to prosōpon tēs geneseōs autou).* N'"inyekwu echiche nke nkebiokwu a ga-abụ *"ihu nke ọmụmụ ya".* N' Okwu bụ ọmụmụ (geneseōs) mmadu nwere ike inu, dika n' okwu bu "mmụpụta (vs 21) n'iganihu nke okwu nke ndi na-

agu akwukwo nwere-banyere "mmughari (vs 18). okwu ahu nke akuworo nime unu (mmupụta) okwu (enyo chineke. 2 Kor 3:18) na-ekpughe ezi ihu nke onye kraist na-anụ okwu a nke ọmụmụ ohụrụ n'ime ezinaulo chineke. Ọ na-egosi ihe ha bụ n'ezie n'ime Kraist nakwa otu ha ga-esi na-akpa agwa n'idebe oyiyi ahụ n'ime onwe ya.

**1:24** Ụzọ a e si ele ụkpụrụ omume Ndị Kraịst anya bụ isi ihe e ji mara akwụkwọ ozi ndị dị n'Agba Ọhụrụ.. Anyi na-amalite site n'imata ihe anyi bụ site n'amara chineke, ma bụrukwa ndi enyere iwu ikpa agwa *n'ụzọ di mma*. (tulee Rom 6:5-14) 1 kor 6:15, 19-20; Gal 2:20; Eph 4:1; Kol 3:1-4; 2 Pita 1:3-7) N'ihi ya, onye kwere ekwe nke nụrụ okwu a mana pụọ ma gbaagha ihe egosiri ya-bu n' eziokwu onye dika onye **mere ngwa ngwa chezo aha madu ọ bụ.** Ịbụ naanị Onye na -anu eziokwu nke Chineke bụ mmadu ichefu ezi njirimara ya dika onye a mụrụ ọzọ na nwa Chineke nke ziri ezi, ma na-akpa agwa dịka a ga-asi na ọ bughi ya.

**1:25** N'ụzọ dị iche n'ebe onye dị otú ahụ nọ, e nwere Onye Kraịst nke na-abụghị **onye nānu anu nke nēchezọ, kama ọ bu onye nēme eme nke nālu ọlu.** onye na-arụ ọrụ ahu (poiētēs ergou) bu echiche zuru ezu nke bụ "onye na-arụ ọrụ". Nke a bụ ntụaka mbụ nke Jemes n'ebe ezi ọrụ di n'usoro nke nkebi di iche iche na-eduga na 2:14-26.

**Iwu zuru okè, bú iwu nke inwe-onwe** bụ "enyo" ime mmụọ bu nke onye kwere ekwe na-ele mgbe ọ nụrụ " okwu ahu nke akuworo n'ime ya." Ebe ọ bụ na enyere iwu, iwu ndi Kraist a bu nke e jikotara na ọdịdị ime nke okike dika onye a mụrụ ọzọ. Ha abughikwa n'uzo ọ bụla ndi no dika ndị ekere agbu kama ha buzi *" iwu nke nnwere onwe* [nnwere onwe]". Ihe onye Kraist na-amụta n'ezie site n'okwu a (dika a huru ya na vv 23-24) bu i na-abụ (n'omume) ihe ọ bụrụla abu site n ike nke mmughari nke okike. Mgbe mmadụ na-eme ihe dika nchepụta okike nke odidi ya, onye ahu n'eziokwu na-enwe obiuto na nnwere onwe n'ibụ ụdị onye ọ bụ.

Nwoke bu onye Kraist nke **lere n'ime ... ma nogide n'ime** okwu chineke bụ onye mikpuru onwe ya n'ikike si na elu (iwu) ma n'ime otú ahụ ọ na-ahụ onwe ya n'ezie ka onye nwere onwe ya. Mmadụ pụrụ iche n'ụzọ dị mfe na Jems n'onwe ya nụrụ ka Jisọs kwuru, sị, "Ọ bụrụ na unu anọgide n'okwu m, unu bụ n'ezie ndị na-eso ụzọ m.

Unu ga-amarakwa eziokwu ahụ, eziokwu ahụ ga-emekwa ka unu nwere onwe unu". (Jọn 8:31-32). Nrubeisi dị otú ahụ n'ebe Chineke nọ n'enweghị ihe mgbochi bụ ihe “nzuzo nke ịzọpụta ndụ anyị”. (Jemes 1:21) na irite uru na ngozi ndi ọzọ Chineke họọrọ inye ndi kwere ekwe. ndi neme ... ọru (onye na-arụ ọrụ) nke amaokwu a, ọ bụghị naanị onye na-anụ Okwu ahụ bụ onye ahụ, **onye a gabu onye-ngozi n’omume-ya**

**1:26** Nzụkọ ma ọbụ nzụko niile nke Jemes na- edegara akwụkwọ abụghị ndi zuru oke. (Lee isi 4). Ma eleghi anya, ha nwere ọtụtụ ndi mmadu ndi na-ahụta onwe ha dika ndi ji nlezianya na-edebe iwu okpukperechi ha ma buru kwa ndi ruru eru maka ngọzi Jemes kwurula gbasara ya (vs. 25). Mana, ọ bụ ihe ana-ahu ebe niile na ndi mmadụ na-eselata aka n’irubere chineke isi ka ha nwee ike imezu ụsọro na ihe omume nke okpukperechi di iche iche. N’ọge Jemes, Nke a nwere ike igụnye ikere oke n’ofufe ndi Kraist mgbe ọ bụla nke ekpere na obubu ọnụ so na ya. Okwu ndi a bụ ikpere Chineke na okpukpe chineke (v 27) eji mee ihe ebe a bụ nke eji kọwaa ụdị ọrụ ndị di otu a.  Mana, ihe Jemes bụ n’obi abụghi ịhe omume nke okpukpe dị iche iche, otu osina di, o bara uru n’uzo nke ha. Kama, ihe o bu n’obi bu agwa zuru ezu nke dị mma na mmekọrita nke ndi ọzọ.

Jems na-eleghara okpukpe nke Onye Kraịst ọ bụla nke na-adịghị achịkwa **ire** ya anya kpamkpam. Ekpere ndi na-egosi ịdi nsọ bu nke ana-ekpe n’ihu ọha ma ọ bụ na nzuzo abachaghi uru ọ bụla ma ọ  bụrụ na onye na-ekpe ya nwere egbubere ọnụ nke jupụtara na ebubo, aghụghọ na ọbụbụ ọnụ mgbe ọ na-agwa ndi mmadụ okwụ (Lee 3:9-10).

**1:27**, N’izu ezu, Nzọrọ ọ bụla nke mmadụ na-eme iji bụrụ onye na-efe chineke nke ọma kụrụ afọ n'ala ma ọ bụrụ na ọ naghi e nyere ndị nọ na mkpa aka ma ọ bụkwanu na-ebi ndụ nke rụrụ arụ bụ nke si n’uwa nke ekweghi ekwe juputara gburugburu ya. **Okpukpe chineke nke di ocha nke a na-emerughi kwa emeru** kariri obere iwu na usoro okpukpere chi na-agbaso iji mee ihe na nzụko ha. **chineke na Nna** nke ndi na-agụ akwụkwọ Jemes- Nna nke ìhè onye mughariri ha (vv 17-18) chọrọ ihe kariri ụdi usoro iwu nke a. Ihe kacha akọwa ọdịdi ya na agwa ya bụ ebere na idebe onwe ya ọcha. Nke a putara na ndi na-agu akwụkwọ Jemes kwesiri **ileta ụmụ-nbei na**

**ndinyom di-ha nwụrụ nime nkpagbu-ha, idebe onwe-ya n-enweghị ntụpọ site n'ụwa.**

Onye Kraịst ọ bụla nke na-adịghị eso ndị nwere mkpa ihe onwunwe karịrị nke ya na-akpakọrịta ma na-enyere ha aka nọ n'oké ihe ize ndụ nke ịbụ onye ịchọ ọdịmma onwe onye nanị, anyaukwu, na enweghị mmasị nke ụwa a ga-emetụta. Enweghi udi ekpere ma ọ bụ iga-nzukọ a ga-eji emezili ọdịda nke e nweghi omịko na enweghi mmekorita n'ebe ogbenye no. Obioma egosiri ndi ogbenye nke e mere na-enweghi mmetuta di mma site n'aka ndị ọchịchị ma ọbụ ihe nguzobe ọ bụla abụghị otu ihe ma ọlị.

2 IHE KARIRI AGWA OMA (2:1-13)

**2:1** Na ntolite nke isiokwu nke ibu "onye na-anụ ihe ọsọsọ" (lee 1:19) Jemes kwuputara *na inu ihe* kariri naani ịge nti n'ọkwụ. Ọ gụnyekwara *ime ya eme* (1:21-25), Mana, O bughi n'echiche nke idebe usoro ihe omume aharizi ahazi kama site n'agwa nke ebere maka ndi nọ na mkpa (1:26-27) ụdị agwa a na- echebe mmadụ pụọ na "ntụpọ" nke uwa (1:27) Ọ bụ isi nke ikpeazụ a na-eme ka e nwee njikọ n'akụkụ na-esonụ (2:1-13).

Ọtu ntụpọ nke ụwa nke a ga-eji nlezianya zere bụ **…ile-madu-anya-n'iru**. Nkwanye ugwu maka ndi ogaranya na nleda anya maka ndi ogbeneye aburula njirimara nke ihụ akụnauba nke ụwa n'anya. N'ihi ya, Jemes na-ekwuputa na ịkpa oke megide ndị ogbenye bu okwukwe dara ada nke ndi na-agu akwụkwọ ya nwere n'ime onyenwanyi Jisus Kraist. Nke a bụ nke bụ eziokwu n'ihi na Kraist bụ **onyenweanyi nke ebube**.

**2:2**: Site n'eziokwu nke onye ozioma a. Jemes na-akowa udi mmeso oma di iche nke nwoke bara ogaranya yiri uwe mara mma nwere ike inweta mgbe ọ batara na **nzukọ** ndi Kraist, karia nke otu ogbenye yiri uwe ruru unyi bata na nzụkọ ga-enweta. a ga-enye onye nke mbụ oche dị mma, onye nke ọzọ ka  a ga-enye oche na-abaghi uru ma ọbụ e nweghi nke aga-enye ya ma ọli. Ma eleghi anya, Jemes achoputala n'ezie udi agwa ọjọọ nke ile mmadu anya n'ihu (v1).

N’ ezie, okwu Grik maka "ọgbakọ" bụ nke eji mee ihe maka "Nzuko ndi juu" "Nzụkọ" bu nke pụtara ìhè ebe a. N’etiti ndi okpukpe nke Jemes na-edetara akwụkwọ (Gụọ ihe e dere ná mmalite). ọ dịghi ebe e nwere ọtụtụ ndi zukọtara n’ụlọ nzụkọ nkiti nke ndị juu ebe ọ bụ na nke a bụ ebe bụ isi otu nzuko ndi juu na-ano enwe ezi nkwurita okwu. Ma-eleghi anya, ọtụtụ nzụko ndi juu bụ ndị Kraist, nke ndi palestin zụkọtara n’ebe obibi di iche iche ebe e nwere ụlo nọpụrụ onwe ya maka iji nwee nnọkọ di iche iche.

**2:3** Nkwụpụta okwu a **Nọdụ ala n’okpuru ihe mgbakwasi ụkwụ m** pụtara n’ezie, "Noro ebe a n’ okpuru (maobu n’ala) n’ okpuru ihe mgbakwasi - ukwụm "Enwere ike inwe nkwubiga okwu ókè n'okwu a, n’ihi na James na-egosi na ọnọdụ e nyere onye ọbịa dara ogbenye dị nnọọ ala nke na ọ nọ n'okpuru ihe mgbakwasị ụkwụ nke bu ihe onye ọkà okwu ji gbakwasi ụkwụ nke ya!

Ihe nke Jemes bụ n’obi nwere ike ibu nke ndi Kraist zụkotara maka icheta nri anyasi onyenweanyi, ya bụrụ otu ahụ, onye ogaranya ka a na-ekwe ka ọ nọdụ n’otu oche n’ime ulo iji na-ele anya ihe na-emenu. Mana, onye ogbenye n’aka nke ọzọ, ka a na-agwa ka, ka o guzoro (dabere n’ahụ aja) ma ọ bụ nọrọ n’ala "n’okpuru ihe mgbakwasi ụkwụ ma ọ bụ n’ihe onye na-ekwu okwu ji gbakwasi ukwu ya. Maka nnabata nke ndi obia n’nzuko ndi Kraist (lee 1 Kor 14:23-25)

**2:4** Ndi na-akpa udiri agwa nke ile mmadu anya n’ihu ọha "o buru na imee nke a" Jemes na-ekwu. **ùnu enweghi obi abua nime onwe-unu?**" Nke a nwere ike ibụ n’ezie ihe o putara n’ihe odide a; mana, a na - ahuta ya dika nkwubi okwu ziri ezi nke a na-enweta site na ihe atu gbaputara ihe e gosiri na amaokwu 2-3. Okwu ndị e ji dee ya, (*ou diekrithēte en heautois*) nwere ike ibu nke a ghọtara n’echiche bu "o bụ na unu enweghi nkewa n’etiti onwe unu". Ya bụrụ otu ahụ "ile mmadu anya n’ihu" bu nke a kagburu n’ihi na o na-eweta adighi n’otu nke ndi Kraist n’etiti onye ogaranya na ogbenye. Nke a na-egosi na ndi na-akpa agwa otu a ekpeela onye ogaranya ikpe dika onye di mma ma nwee ugwu dika ụdi mkpebi ikpe a bu nke na-ezighi ezi ma na-emekwa ka ndi na-eme ha buru **ndi-ikpé nēchè èchìchè ọjọ**

**2:5** Udiri agwa a, akatọrọ na-anọchite anya ihe ana-aguzighi agụzi n’ụzo siri ike. Jemes chọrọ ime ka uche ndi Kraist ibe ya diri n’ihe nguzi a na-edoghi anya nke na -ezighi kwa ezi. **Nurunu, umu-nnam ndi m'huru n'anya**. Nke bụ "gee nti na nke a. Ntoala nke iwu Jemes na- ekwuputa na-agwa ndi na-agu akwụkwọ ya na ile mmadu anya n’ihu n’ebe ndi ogaranaya no na-aga n’ihu iputa ihe n’onwe ya. Ma onye ogbenye akpapụrụ iche nwere ike ibụ ọgaranya n’anya Chineke. **Chìneke arọputaghi ndi bu oḅeye n'ihe nke uwa ka ha buru ndi-ọgaranya n'okwukwe?**

Ihe kariri otu mgbe ka akwụkwọ nsọ na-egosiputa okwukwe nke juru eju ma o bụ nke pụrụ iche n’agwa. (Matt 8:10; 15:28; olu ndi ozi 6:5; 11:24; Hebrew 11). O doro anya na ọ bụghi onye ọ bụla nke nwere okwukwe ka a ga- akọwa dika onye bara ogaranya n’okwukwe. Mana okwukwe dị obere nwere ike

Nweta uru zuru ezu. Ma ọbụna obere okwukwe pụrụ inwe ihe ndị dị ịrịba ama ọ na-arụpụta (Matt 17: 20; Luke 17:6) N’ihi na ọ bụ chineke nke ebighi ebi. Ihe bụ isiokwu ebe a bughi maka nzọpụta ebighi ebi. Ntakịrị okwukwe n'ime Kraist ezuola maka nzopụta (ỌLU NDI OZI 16:31). Isiokwu kwesiziri ịbu: Ole n'oke ha aṅaa ka onye Kraist na-atukwasi Chineke obi na ndu ya kwa ubochi? Ole otu ntukwasi obi chineke obi na ndu ya kwa ubochi? Ole otu ntukwasi obi mmadu ga-esi ria elu n’ ogo di ukwuu mgbe odịdị elu ahụ ya na-akuda mmụọ n’uzo miri emi? a bia n’ụzo ozọ, onye Kraist bara ọgaranya nwere ike inwe ntakiri ohere iji tụkwasi Chineke Obi maka mkpa ya karia onye ogbenye nke ga-atụkwasiriri ya obi site n’ubochi ruo n’ubochi nakwa mgbe ufọdụ site na nri ruo na nri. N’ihi ya, site na ndokwa enyemaka nke chineke, onye Kraist dara ogbenye nwere ike ibu ọgaranaya n’ ebe okwukwe nke ya di n'ime Chineke mana onye Kraist bụ Ogaranya nwere ike ibụ onye dara ogbenye n' akụkụ nke ahụmahu ịme mmụọ. Ndi na agụ akwụkwọ Jemes kwesiri icheta nke a, na mgbe ọ bụla nwanna na-adighi mma ile anya, nke dara ogbenye biara mgbakọ ha, n' agbanyeeghi ọdịdị elu ahu ya, o nwere ike ibu onye bara nnukwu ogaranya n’ ụzọ ime mmụọ!

N'ezie, o bụru otu ahụ, o bukwa otu n'ime ndi **isi nke alaeze ahụ**. Site na nkebiokwu a, Jemes na-egosi na onye ogbenye nke bara ogaranaya ga abu onye ga-eso Kraist na-achi n’ alaeze chineke - dika Kraist na-eketa alaeze ahụ (Abu Oma 2:8-9) N'ihi iguzosi ike n'ihe Ya nye Chineke Nna. (Hib 1:8-9, na-ehota Abụoma 45:6-7) Otu ahụ

ka ọ di kwa maka ndi nketa nke alaeze ya. N'ihi ya, *alaeze* a bụ nke **ekwerela na nkwa maka ndi hụrụ chineke n'anya**. O bụ ezie na nzọpụta bụ nke ana-atukwasi n' efu ozugbo mmadu gosipụtara okwukwe dị mfe n'ime Kraịst maka ndụ ebighị ebi, ma alaeze a abughi *nke a na-eketa n'uzo ahu*. Ibụ onye nketa nke alaeze chọrọ ihụ chineke n'anya, bụ nke a ga-egosiputa naani site na nrubeisi nye ya. (Jon 14:21-24) Ebe nrubeisis n'onwe ya bụ mmeputa nke ibi ndu site n' okwukwe (lee Gal 2:20). Onye ọ bụla nke na-anaghi ebi ụdi ndụ a, agaghi akpo ya ogaranya n' okwukwe, n' agbanyeghi na o kweere na Kraist maka nzoputa ebighi ebi.

**2:6-7**. Ndi kwere ekwe dara ogbenye, n oge ahu, chọrọ ịbị ụdi ndụ ahu na kwa ịbu ndi di mkpa ñ ìhè nke obibia alaeze Chineke, ileda onye dara ogbenye bịara nzukọ anya bụ ịghara iburu eziokwu ahụ n'uche. "unu gaara asọpụrụ ya" Jemes na-ekwu **Ma** (kama) **unu onwe-unu mere oḅeye ahu ihe-ihere.** dika otu ndi, ndi bara ọgaranya na-abukari ndi a na-ele anya dika ndi iro nke "iso ụso Kraist" nakwa ndi mmegide karia ịbu ndi enyemaka maka njiko ndi Kraist. N'ihe odide nke ndi Juu nke akwukwo a, ọtụtụ ndi na-ekweghi ekwe, bara ọgaranya nke ndi Juu bụ ebe bụ isi nke mmegide ndi Kraist nakwa inwe ike **nādọkpuru** [ha] **ga ulo ikpé** site n'ihe akaebe ụgha ọ bụla. Ọzọkwa, ọtụtụ ndị alaghị azụ nēkwulu **aha ọma ahu** "onye nwe anyi Jisus Kraist," v1 **nke aguru unu**. Site n' itinye okwu ndia maka ndi nwoke bara ogaranya n' ụzọ ajụjụ, Jemes na-eme ka ha hụ ihe ha maara na mbụ. Ọ baghị uru ka onye ọ bụla na-agụ akwụkwọ Jemes jiri nkwanye ùgwù nabata onye bara ọgaranya n'ọgbakọ Ndị Kraịst, ma n'otu oge ahụ na-eleda onye nwere ike iketa alaeze ahụ anya!

**2:8** Anaghị ele mmadụ anya n'ihu n'imeso ma ndị ọgaranya ma ndị ogbenye ihe karịrị nnọọ ileghara eziokwu ahụ anya n'ihe banyere òtù abụọ a nke ụmụ mmadụ. N'ụzọ ka mkpa, ọ bụ ọdịda nke ụkpụrụ omume Ndị Kraịst. Ọ bụ imebi **iwu nke Eze-ayi**, nke Akwụkwọ Nsọ nke na-enye iwu ka mmadụ hụ onye agbata obi ya n'anya dabere n'otú onye ahụ ga-achọ ka e si mesoo ya ihe. N'ezie, ọ dịghị onye ọ bụla chọrọ ka e lelịa ya anya n'ụzọ Jems si kọwaa ya (amaokwu nke 3).

N' ikpọpụta iwu a bụ **Hu onye-aḅata-obi-gi n'anya dika onwe-gi,** *iwu nke Eze-ayi*, Jemes na -eweputa ncheta okwu nke nwere ihe karịrị otu akụkụ dị mkpa mee ihe. Iwu nke bu ihụnanya bụ nke nwere ụkpụrụ nke eze n' ihi na e nyere ya site n' aka

eze-bu Onye nwe anyi Jisus n’onwe ya, n'eziokwu dika onye mkpughe mbu nke si n’elu (Lev 19: 1, 18) n’dika o'mere ebe obibi ya n'etiti ndị mmadụ (Matt 22: 37-40) Mana, o bụ iwu nke Eze n' ihi na o di n' usoro nke iwu dị elu kwesiri ekwesi nke onye Eze. Jemes na-emekota ya n’ isiokwu nke ihe nketa n’ alaeze bu nke o bụ uzọ kwuputa (Jes 2:5). Ndi nketa a bụ ndi eze odinihu nke alaeze Chineke ha kwesiri ijikwa onwe ha n’ ikweko n’ iwu nke *eze* (ochichi eze ) *nke ihụnanya* maka onye agbataobi nke ya.

N' ihi ya, site n’ ụzọ nka atulere nke ọma, Jemes tinyekotara n' ihe odide ya iwu abụọ dị ukwu nke mkpughe agba ochie (Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie), na-ejikota ha n’ okpuru isiokwu nke ochichi Eze. (Iwu abụọ a bukwa akuko nke ogbụgba ọhụrụ, "iwu nke nwere onwe" (lee nkwupụta na 1:25 na 2:9) Ndi Eze ọdinihu a na-atu anya ya: ga-enweta (ga-achi) alaeze ma ọ bụrụ na-ha "ahụ chineke n’anya" (vs 5) mana nke a chọkwara ịhunanaya maka ndi mmadu (tulee 1 John 4: 20-21).

**2:9** Mana, *ha* mezuru ya n’ eziokwu? O bụghi ya, ma o bụrụ na ha egosi **ile mmadu anya n’ ihu** n’ ebe ogaranya nọ ma megide ogbenye , maka na n' akuku nke ahu, **ha na eme mmehie,** nakwa iwu akwụkwọ nso nyere maka ihunanya na-ekpughe ha dika ndi njehie nke iwu Chineke. Ihe iru uka, a dighi ya, dika ndi Jụụ atọghatara n’ iso uzo Kraist, ndi na-agu akwukwo Jemes ka jikwa ukpụrụ omume ọma nke Chineke dị n’ iwu agba ochie (Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie) n’ ụzo di elu. Asi kwuwe, nke o bula n’ ime iwu iri ahụ, ewezuga nke gbasara ụbochi izu ike, bu nke e kwughachiri na agba ohụrụ (Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ). N’ihi ya, iwu ndi a ekwughachiri ekwughachi na-ejikota ndi na-ebi ndụ n’ okpuru ọgbụgba ndụ ọhụrụ karia n’ okpuru nke ochie, bu nke ewezugara iche. (Lee Ndi Hibru 8). N’ihi ya, ọdida nke ịhụ nwanna nwoke dịka Onye ahụ n’onwe ya (nke bu ọdida pụtara ihe n’ebe ile mmadu anya n’ ihu di) na-atunye ụtụ di n' imebi iwu nke uche Chineke maka ndi kwere ekwe.

**2:10** N’iga n’ihu, ọdida dị otu a na-ekpughe ezuchaghi ezu n’ime ìhè nke ukpụrụ dị nsọ nke Chineke. Ida ịwu nke Jemes na-ekwu okwu ya bụ imebi iwu **nile** enyere. Otu ọ bula dị mma mmadụ nwere ike isi na-edebe ihe niile dị n’ime ya, immehie megide ihunnaya na - egosiputa ikike mmadu dika onye mmebi iwu, nke bu, onye ọhị n’ihu ndi otu ikpenke ikpe ziri ezi.

**2:11** Echiche nke a na-enye nsogbu bu nke Jemes mere ka o dokwuo anya site na nchọpụta o mere nke bu na iwu ndi megidere ikwaiko na igbu mmadụ bụ akụkụ nke otu iwu ahụ. Ebe ọ bụ na mmehie abụọ a nwere ntaramahuhu site n'ọnwụ n'okpuru ọgbụgba ndụ nke ochie, arụmuka Jemes nwere ikike di ukwuu. N'eziokwu, Ọ na-ekwu, **ma ọ buru na i kwaghi iko, ma i nēḅu madu**, idi nsọ n'otu akuku anaghi ewepụ mmadụ na nke ọzọ. Dike ndi na-agụ akwukwo Jemes kwesiri ịma, ndi ọgbu mmadu tara ahụhụ kwesịrị ekwesị maka imebi iwu ma o bu enweela ma o bu enwebeghi mgbe ha kwarala iko.

N'uzo pụtara ihe, Jemes na-ekwupụta onwe ya na agwa ndi Juu bu ndi Kraist na-agu akwukwo (lee okwu mmeghe) bụ ndi ka jigidere okwu banyere ndebe iwu. Omenala ha na ihe nnweta ejikọsiela ha ike na nke a, ọ bụnadi mgbe ha bu ndi nweere onwe ha site n'okukwe n'ime Kraist. Jemes na-ede ihe site na ihe ọ maara nke ọ ma na nke doro anya maka ụdị ndi a na-agụ akwụkwọ ya. Ebe o bu na nnwere onwe abughi isiokwu n'ebe a; ikike igu ihe ya (dịka ndi ana - azọpụtaghi mana ha bụ mba eziomume nke onwe ha na eso) mere ka o doo anya ụgwọ dị ukwuu a kwụrụ maka izere ụdi mmehie ndịa dika ikwaiko na igbu mmadụ mana, Ha kwesiri ibụ ndị e chetaara na ọdida nke ihụ nwanna dara ogbenye n'anya bụ onye biara nzụkọ ha wepụrụ mbụ ụli-elu ọ bula ha nwere ike inwe n'irube isi n'iwu Chineke n'akuku ndị ọzọ. Mmadu nwere ike irube isi na ha niile, ma ọ bụ na o rubeghi ya isi - nke o bụla mmebi iwu ahụ nwere ike ibụ.

Ọ bunadi ndị Jemes tọghatara na-agụ akwukwọ ya, otu ọ bụla o sidị, E kwesịrị ka e chetara ha eziokwu nke gbasara iwu a, ma o bụghị ya, ha ga-agonahụ agwa nke enweghi ihunanaya nke ile mmadu nakwa iji elezighi anya na-agụ onwe ha ka ndi ndebe iwu n'anya n'ihu Chineke. "Echekwala otu ahu ma ọli. Jemes na-asi, " Maka na agwa enweghi ihunanaya na - edebe unu n'okpuru mmebi nke iwụ, ọ bụghi na nkwado nke iwu" N'ihi ya ụdị "ọnụnụ" Jemes choro n'ebe ndị na-agụ akwụkwọ ya nọ (lee 1:19-25) abụghị agwa ọma nke nkewapụ site na mmehie ndị dika ikwa iko na igbu mmadu. O bụghi ya n'eziokwu. "ịbụ onye na-anu ihe ngwa ngwa" bụkwa ibụ onye na-ahu n'anya ngwa ngwa" nke ahụ na-ewepụkwa ile mmadụ anya n'ihu.

**2:12** Mana ọ bụghi n'iwu nke agba ochie (Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie) ka a ga - esite kpee ndị Kraist ikpe, kama ọ bụ site **n'iwu nke inwe onwe onye**, bụkwanụ ọ

bụ ụzọ kpọtụ uche. (lee mkparita uke nke 1:25): Nkebiokwu ziri ezi nke *inwe onwe onye* na-atu aro doro anya nke gosiputara ọdị iche site n'okwu nkịtị bụ *iwụ* mgbe ọ na- erughi eru. Jemes kwetara n'ezie site na nkọwapụta nke Pita maka iwu nke agba ochie (Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie) dịka "agbụ nke igba ọhu" (Ọlụ ndị ozi 15;10). O sonyeere na nkwubi okwu ikpeazu gbasara nsogbu iwu ahu bu nke e mere ka o doo anya n'Kansụl Jeruselem (vv 13-29). Jemes maara na ndi Kraist anọghi n'okpuru iwu kama n'okpuru amara". (Ndi Rom 6:14). Nke a bụ ikwụ na, ọ maara na ndị Kraist anọghị n'okpuru iwu Moses nke ogbụgba ndu ochie. Mana, Jemes matakwara na uche chineke abụrụla nke ekpughere n'uzo dị ukwuu maka ndị ọgbụgba ndụ ọhụrụ site na ndị ozi na ndị amuma nke Agba Ọhụrụ na-nke kacha ha niile - site "n'onye nwe anyi Jisos nke di ebube". N'eziokwu, ọ bụ udi mkpughe a bụ nke e meere maka ndi a murụ ọzọ nakwa nke dabere na ntoala pụtara ihe nke ọdidi ndi a mụghariri ọzọ. Na nke a, o bụghi ibu arụ ma olị (1 Jon 5:3-5) mana, ọ na - enye ha ohere igosipụta ndi ha bụ n'ezie dika ụmụ nke chineke. N'ihi ya, ọ bụ iwu nke nnwere onwe.

Mana, n'otu oge ahu kwa, o bu njiri mara nke agwa nke a ga - eji kpee ndụ onye Kraist ikpe. N'ihi ya, ndi kwere ekwe **kwesiri ikwu nakwa ime otu ahụ** site na - iburu echiche a n'obi. A ga-atule ndu ndi Kraist n'ime ihe di elu nakwa ukpuru ndi nsọ site n'iwu nke nnwere onwe.

Na- ikwu maka ikpe, Jemes na-ekwu naani maka ihe a kpọtụru uche dika oche ikpe nke Kraist (2 Kor 5:9-11). Na- irụtụ aka na ndụ ebighi ebi, onye kwere ekwe agaghi abanye n'ikpe. (Jon 5:24). O nweghi ihe dị ka ikpe maka ndi kwere ekwe nye ikpebi ma ha ga-aga eluigwe ma ọ bụ n' okụ ala mmụọ, onye kwere ekwe *abụrula* onye gaferela site na ọnwụ gaa na ndu nakwa na o nweghi ụgwọ a ga-eweta megide ya n'ihi na *ọ bụrụla* onye nwere onwe ya. (Jon 5:24; Ndi Rom 8:32-33). Ndị na-ekwu na ikpe a dị na Jemes 2:12 metụtara ndụ ebighị ebi maka ndị kwere ekwe, pụrụ ime otú ahụ nanị site n'ibu ụzọ gụọ ya!

**2:13** Otú ọ dị, oche ikpe Kraịst dị nnọọ ebube nke na ọ dịghị onye pụrụ ile ya anya n'aghọtaghị otú ọ na-aghaghị isi bụrụ ihe di egwu na ihe na-achọsi ike. Pọl ghotara akụkụ nke a n'onwe ya (2 Kor 5:11). Onye ọbụla maara ihe ga-amariri na **ikpe** nke ndu nke Kraist ya "site n'akwụkwọ" (ya bụ site n'ụzọ zuru oke nke ukwu) ga - eme

ka o nweta nkocha site n’onye nzọpụta ya nakwa ihapu ụgwọ a na-atụ anya ya. Ihe a chọrọ n’ubochi ahu bu Ebere - ọchicho ziri ezi n’sakụkụ nke onyenwe anyi na onye ikpe iji leruo ma okwu na agwa nke ndi kwere ekwe anya n'oke ọmịiko zuru oke. Mana, olee otu ha ga-esi debe ebere nke aga-acho ngwa ngwa n’ ụbọchị ahụ?

Aziza Jemes dị mfe ma dịkwa ụtọ! O toro ebere. N’ihi na **ọ bụrụ na mmadu nke na - anaghi eme ebere** ga- enweta emeghi ebere n’ ụbọchi ahụ, nkwubi okwu a ga-abụriri eziokwu: onye nke gosiri nnukwu ebere ka a ga-emere nnukwu ebere. N'eziokwu, ọ bụrụ na anyị na-emere ndị ọzọ ebere, ọ ga-eme ka anyị 'merie' mgbe a ga-ekpe anyị ikpe n'ọdịnihu n'ihi na ebere na-emeri ikpe. Ọkwụ a bụ mmeri *(katakauchaomai)* nwere ịke ibụ "di elu" dika a ga-asị na ebere na-añụrị ọñụ site n’okwu ndi bụ mmeri n’ebe ikpe di. N'ihi ya, ọ bụrụ na Onye Kraịst ejiri ebere na-achịkwa okwu na omume ya mgbe nile, ọ pụrụ ịpụta onye mmeri n'ụbọchị Chineke ga-ekpe ikpe.

N’ìhè a, n’oge ahụ, agwa nke nleda anya n’ebe onye ogbenye no nke di na Jemes 2:2-3, bụ usoro jọgburu onweya ịgbaso. Kama, onye ogbenye ahụ Kwesịrị ibụ onye a ga-anabata n’ụzọ na-ekpo ọkụ nakwa nke eziuche nke onye na-eme ebere ji nlezianya na- egosiputa. Ọ bụ naanị n’uzo ahụ ka mmeso ya ga -abụ nke ziri ezi karia inwe echiche n’ezighi ezi n’oche ikpe nke Kraist.

(3) Ọ Kariri Okwukwe Gara Aga (2:14-26)

**2:14** Jemes na - emepe nkebi nke agbamume site n’ikwuputa ntọala bụ isi nke okwu. Ọ bụrụ na onye o bụla si na o nwere okwukwe mana ọ naghi arụ ọrụ nke nrubeisi nke ụdị Jemes kwurula okwu ya (1:26-2:13). Gini zi? Ọ ga - echeli na okwukwe ya n’okwu chineke ga-azọpụta ndu ya".(1:21) ma ọ bụrụ na ọ bughi onye na-arụ ọrụ. (v 25)? N’aka nke ọzọ - **òkwukwe ahu** ọ **puru izọputa ya?**

N’ezie, ajụjụ a (na Grik) na - ekwupụta azịza a nke onwe ya ma bụrụ kwa nke e nwere ike isụghari n’ụzọ dị mma, "okwukwe agaghi azọpụtali ya, ka ọ ga-eme ya?" Aziza a na -atụ anya ya bu, "Ee ee!" ọ gaghi azọpụta ya! Mana, N’eziokwu, okwukwe *nwere ike,* ma *na-azọpụtakwa* mgbe mmadu na-ekwu maka nzọpụta *ebighi ebi.* (ihe atụ Efe 2:8-9) Mana ebe a - dika Jemes Kwupụtara ya - okwukwe agaghi azọpụta mmadụ dabere n’ọnọdụ ọ bu n’uche (lee mkparita uka di na Jemes 1: 21 )

N’ihi ya na Jemes 2, Odee mere ka o doo anya na ọrụ bụ ọnọdụ maka nzọpụta. Ọdịda nke inabata nke a, bụ isi mmalite nke nsogbu na-ebilitenu site n’ederede a maka ọtutụ ndi mgbasa ozioma. Ndi na -agụ akwụkwọ kwesiri ichọpụta *na Jemes enweghi ike i na ekwuputa nzọpụta site n’amara*. mana kama inabata nkwubi okwu ndi a, ọtụtụ ndi nsụghari okwu na-ezere ya.

Nke a, ka a na-emekari site n’igbali ka asụgharia ajụjụ a "okwukwe o ga-azọpụta ya?” (2:14) site "nke *ahụ* [ma ọ bụ ụdị]  “okwukwe a o ga-azọpụta ya?” Mana, okwu mmeghe ndị a dịka "Nke ahu" ma ọ bụ "ụdi" dika ndi mmezu maka “okwukwe” bụ n’eziokwu ihe ajụrụ aju n’ihe odide. Grik anaghi akwado ụdị nsụghari nke a.

N’ agbanyeghi ya, nkwado - maka ndepụta ndi a "ụdị okwukwe" ma ọbu "okwukwe nke ahụ" na-abukari nke a na ahụta n’ihu ihe odide nke Grik site n'okwu bụ "okwukwe". Mana, n’ihe ederede a, ihe odide nke a pụtara site n’okwu bụ "okwukwe" na amaokwu 17, 18, 20, 22, na 26 (na amaokwu nke 22 ọ na-atụ aka n' ebe okwukwe Ebreham di!). E nweghi ebe i ga – ahu Okwu ndi a "ụdị ma ọbu nke ahụ" dika nsughari akpachaara anya dee.  Dịka a maara nke ọma, asụsụ Grik na ewebatakari ihe odide a site n’ itinye  ya ahauche ndia (dịka okwukwe, ihunanya, olileanya, dgz). Ebe asusu Bekee agaghi eme otu ahụ. A bịa n'ụdị ndia, ihe odịde Grik na-abụ nke a na-agaghi asụghari. Mgbali e mere iji wepu 2:14 maka nlebara anya puru ichie buteere ndehie ihe n’ihu nke ya.A ga-ahaziriri ya dika ihe etinyere mgbali ngwa ngwa iji kwadoo nsụghari na-enweghi nkwado.

Nkwupụta okwu ndia nke sitere na Jemes agahi abu nke ewepụrụ ewepụ. Dika asụsụ na-akowapụta ya n’ụzọ ziri ezi, okwukwe n’onwe ya anaghi "a zopụta" n’ịkweko na Jemes. Mana, "Zọpụta," n' echiche nke gịni? Ma ọ bụ nke ka mma, "zọpụta" site na gịnị? Site na ọkụ ebighi ebi? ka ọ bụ site na ihe ọzọ? Naani aziza kwesiri ekwesi , n'ihe nke ozioma niile, bu ikwu na Jemes na-ewelitekwu isiokwu nke 1:21 (ekwupụta na ya ọzọ na 5:19-20). Isịokwu nke a bụ eziokwu na nrubeisi n' okwu Chineke nwere ike “ịzopụta” ndụ site n'ihe si na mmehie pụta ìhè (lee 1:15 na mkparitaụka) Naanị okwukwe  enweghi ike ime nke a. Ọrụ nke nrubeisi dị oké mkpa.

**2:15-17** O bụrụ na mmadụ etinye n'obi ya. Nkwupụta okwu nke bụ "izọpụta ndụ site na nrubeisi, "mgbe ahụ okwu ndia nke 2:15-17 nwere ike ibụ nke a ga-anụ n'uzo pụtara ìhè. e nwere ike iji maka na mmadu ji ozizi ziri ezi ma bụrụkwa nke ọgbaraohụrụ "zoputa" ya site na agwa nwuru anwụ nke mmehie? Ọ bụghi ya n'ezie! Echiche nke a adabaghi adaba. Nke a bụ dika mmadụ ikwụpụta Ọkwụ mara mma n'ebe nwanna nwoke ma obu nwanyi ndị na-enweghị ego nọ mgbe ihe ha chọrọ *n'ezie* bụ nrị na uwe (2:15-16). Nke a bụ okwụ ọnụ na-anaghi ami mkpụrụ. Dika ihe si bụrụ eziokwu, udi agwa nke enweghi mmetuta n'akuku otu onye Kraist n'ibe ya bu kpọmkwem ihe Jemes nogidere na-ekwu okwu iji megide ya (Lee 1:27; 2:2-6). Ọ kowara echiche ya n'ụzọ kacha mma.

Udi okwu ndia na-enweghi ihe eji ya eme dika "ihe nwụrụ anwu" (enweghi mmetuta) dika okwụkwe nke ọrụ na-adighi. N'ihi ya, **Jemes sịrị, Ọbuná otú a okwukwe, ma ọ buru na o nweghi ọlu, ọ bu ihe nwuru anwu n'onwe-ya.** E kwesịrị ka ejiri nlezianya chọpụta ihe mere Jemes ji horo okwu bu *nwuru anwu* iji kowaa okwukwe nke na-anaghi aru ọrụ. Mana, ozugbo ejikotara okwu nke a n'ebe okwu nke anabatara di mfe bụ "ịzọpụta ndụ (1:21) ihe niile biaziri doo anya. Isiokwu nke na-echegbu Jemes bụ isiokwu nke *ndụ* ma ọbụ *ọnwụ*. Okwukwe nke nwuru anwu ọ nwere ike izopụta onye Kraist site n'*ọnwu*? Ajụjụ a azaala ya n'onwe ya. nhọrọ nke nkowa aha bu *onwu* kwekọrọ n'uzọ zuru ezu n'arụmụka Jemes. Dikwa ka okwu na enweghi uru ọbara nke ufodu ndi kwere ekwe na-anaghi emesapu aka na-enweghi ike izoputa nwanna nwoke site n'ọnwu n'agbanyehi ihe onwunwe nke ndu, okwukwe nke na-enweghi oru enweghi ike izoputa ndu *onye kwere ekwe* site n'onwu - mmeso *ihe oghom* nke mmehie. N'ihi nzube nke a, okwukwe bu nke na-anaghi amuta ihe nakwa nke na-anaghi arụ ọrụ site *n'onwe ya,* maka na o nweghi ike irụzu ihe ndị a achọrọ.

Ndị na-akọwa Bible na-ejikarị okwu ahụ bú *ọnwụ* eme ihe n'ụzọ dị mfe. Dika okwu mbụrụ *onwu* bu ihe a na ejikari eme ihe dika ihe ana-enweghi ihe ọ bụ karisia okwu bu isi ewebatara bụ onwu/ndụ iji kowaa nzopụta n'oku ala mmụọ. Mana onye ọ bula asụsụ doro anya maara na "onwu" na "inwu anwu" bụ echiche a nabatara nke nyere ikike n'otụtụ n' udi mbụrụ di iche iche n'ihe fọdụrụ ntakiri ka ọ bụrụ asụsụ ọ bụla. Asụsụ Bekee n'onwe ya nwere ọtụtụ ("iwu a bụ akwụkwọ ozi nwụrụ anwụ," "i nwuru anwu hiere ụzo" "Ọ ṅụgbuola na mmanya", "ọ bụ ọbọgwụ nwụrụ anwụ" "Echiche ahu anwuola" "ha na-agagharị site na ngụkọta nwụrụ anwụ" dgz) Otu ahụ ka o dikwa asusu Grik (na nke Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ n'onwe ya) O hiwere isi n' udiri

mbụrụ ndi a. Na ndi Rom naani, Pọl na-ekwu na ahụ́ Ebreham "nwụrụ anwụ" mgbe ọ ka dị ndụ, ọ na-ekwukwa na “n'àkpà-nwa Sera na ọ bu ihe nwuru anwu”. (Rom 4:19). Pol na-ekwu “n'ihi na nmehie bu ihe nwuru anwu ma iwu adighi ya” (Rom 7:8) (“ma adighi-agu nmehie mḅe iwu nādighi” [Rom 5:13]), wee kwupụta na “mmehie ahu we di ndu ọzọ, mu onwem we nwua” (Rom 7:9). N'otu aka ahụ, a pụrụ ịkọwa ahụ Onye Kraịst, nke Mmụọ bi n'ime ya, dị ka nke "nwụrụ anwụ" (Ndị Rom 8:10) N'ezie onye Kraist ahu, n’onwe ya bu onye amụghariri ọzọ.  Akuku di iche iche n'okwu a Pọl ji mee ihe bụ "onwu" bụ ihe ama pụtara ihe site n'ihe odide ndị a. Ọmụmụ nke ihe ndepụta na-ewepụta ihe atụ di icheiche n'akụkụ ndi ọzọ nke (NT) agba ohụrụ dika ọ di na (iheatụ) Luke 15:24, 32; Hib 6:1; 9:14; Mkpu 3:1) O dị nnọọ njọ ịche na nkebiokwu Jemes maka "okwukwe nwụrụ anwụ" nwere ike inwe naani otu ihe ọ pụtara, a kpọọ ya aha, nke metụtara ọmụmụ banyere nzọpụta. ikwupụta a bụ ikowa na obu eziokwu n'enyeghị ihe akaebe ọ bụla.

Ya bụ, mgbe a na-akowa okwukwe dịka ihe nwụrụ anwụ  na Jemes 2, nke a nwere ike idi mfe nghọta n'ihe odịde nke pụtara na (maka nzube a tulere atule) okwukwe adịghị amị mkpụrụ, o nweghi mmetuta ma ọ bụ ọ naghi arupụta ihe.

**2:18-19** Jemes anaghi ele anya ka a ghara ima okwu ya aka. Ọ bụnadị ndi Kraist, mkpali nke ileghara ma Obu kpuchie odida anya bụ ihe siri ike. Jems na-atụ anya banyere ihe ndị na-agụ akwụkwọ ya pụrụ ikwu, ọ gụnyekwara ihe ha chere na ọ bụ ihe ha ga-ekwu n'ihe o dere. N'oge Jemes, ndị edemede na-ejikarị ndị nkatọ e chepụtara echepụta eme ihe n'ihe odide ha ndị metụtara omume ọma, n'ebe a kwa, o ji usoro a na-ejikarị eme ihe mee ihe. Ihe nile dị n'amaokwu nke 18-19 bụ banyere onye a echere na ọ bụ ya kwuru okwu ahụ .

Okè na ihe okwu Onye nkatọ a pụtara aburula nsogbu dị ogologo oge nye ndị na-amụsi Baịbụl ike ma na-akọwara ndị ọzọ ihe o kwuru. NKJV  sooro nghọta pụtara ìhè n'akara edemede nke amaokwu 18-19. Okwu ndia "**Gi onwe-gi nwere okwukwe, mu onwem nwe-kwa-ra ọlu** " bụ nke emechiri site n'akara edemede nke NKJV nke a na-egosi na a na-ewere okwu ndị a naanị dị ka okwu nke onye ahụ na-arụ ụka.(ihe ndị ha na- arurita uka gbagwojuru ndị na-amụsi Baịbụl ike ma na-akọwara ndị ọzọ ihe o kwuru anya). Okwu nke fọdụrụ n'amaokwu nke 18 na ndi nke di na 19 bụ nke eweere site na NKJV dịka nzaghachi nke Jemes, ọ bụ ezie na o doghị

anya otu ha si zaa okwu ndi ahu ndị nrurita uka welitere. Mana, akara ọdide niile di n'ime Baibul Bekee bụ akara nke ndi nhazi odide, ebe ọ bụ na ihe odide mbụ nke akwụkwọ Jemes nwere ike inwe obere ma ọ bụ na onweghị. Mana, ihe odide ya bụ naani ihe aghọtara n'ụzọ di mma mgbe ihe ndi mejupụtara amaokwu 18-19 (nke bidoro sitena, *gi onwe gi nwere okwukwe*) bu nke e nyefere n'aka onye nrurita uka ana enweghi nke e nyerefere n'aka Jemes.

N'amaokwu 18-19, usoro ihe ndeputa nke pụtara ìhè nke Jemes jiri mee ihe bu nke doro anya sitere n'okwu mmegide nke Grik diatribe bụ nke hiwere isi n'ọmụmụ ihe nke ụdị arụmuka. Ụdị nke ewebatara n'amaokwu 18-20 nwere ike ibụ nke akpọrọ usoro " Nkatọ /nzaghachi". Okwu ndia n'udị nke Jems "bu mmadụ ga-asi" (v 18) na-eji okwu ndị a eme ihe iji webata Nkatọ ahụ, mgbe e kwupụtakwara nkatọ ahụ, Nzaghachi ngwa ngwa na-amalitekarị n'okwu ndị dị ka "ma ị na-acho ka ị mara, gi mmadụ efu" (v20 ) ụdi nhazi okwu nke Jemes jiri mee ihe pụtara ọzọ na Ndi Rom 9:19-20 nakwa 1kor 15;35-36. Echiche nke ọtụtụ odee bu na nzaghachi nke Jemes kwesiri ibido na amaokwu 18b mere ka ha ghara ikweta ihe gbapụtara ìhè nke ahaziṛị nke ọma nke ihe odide Jemes. Ndị edemede ndịa adaala n'imepụta ihe odide a ga-eji tụnyere ihe odide ọgbara ohụrụ nke agụmagụ! onye odee akwụkwọ a weere ya na ọ dị mma ka okwu onye Nkatọ ndi a ruo na ngwụsi nke v19.

Mana, gịnị ka okwu Nkatọ pụtara? ebe ọ bụ na otutụ ihe odide nke Grik gụtụrụ ọkwu a "site (*ek*) n'ọnọdụ nke okwu amaara nke ọma "ewezuga" (*Choris*) na v18 ọgụgụ bụ "site" bụ nke achọrọ ebe a.

Enwere ike inye nkwupụta nke Onye nkatọ ahụ dị ka ndị a, na-ejigide usoro okwu Grik n'ụzọ ziri ezi kaṛịa ka NKJV na-eme:

*Otu onye ga-asi: "Gi onwe gi nwere okwukwe, mụ onwe m nwerekwara ọrụ: gosim okwukwe gi site (ek) n'ọrụ gi, mụ onwe m ga-esitekwa n'ọlụm gosi gi okwukwem" Gi onwe gi kwere na Chineke bụ otu. i na-eme nke oma. Ndi mmụọ ọjọọ kwekwara, we kụja"* (vv18-19, nsụghari nke odee).

Arụmụka nke okwu ndi ana-ezipụta, na-aghọ ihe *reductio ad absurdum* (na-ewetu nkwenye nke echiche amamihe mmadụ di ka ihe na-enweghị isi). Ọ bụ ihe sịṛị ike

site n'okwu ndi megidere ibe ya "o kwekọghi n' echiche ziri ezi" ka onye Nkatọ kwuru, "ihụ njikọ dị nso n'etiti okwukwe na ọrụ. N'ihi arụmụka a, ka e were ya, ị nwere okwụkwe ma mụ nwa nwere ọrụ. Ka anyị bido ebe ahụ. I nweghi ike ọzọ ibido site n'ihe i kwere ma zim ya site n'ọrụ gi niile, karia ka m nwere ike ibido site n'ọrụ m niile ma gosipụta ihe ahụ bụ nke m kwere. Onye nkatọ nwere obi ike n'ọrụ abuo a-agahi ekwe omume. Odidi siri ike nke mmadụ egosighi okwukwe site n'ọrụ ya bụ nke a na-ahụ ugbu a (dika onye Nkatọ chere) site n'ihe atụ: ma ụmụ mmadụ ma ndi mmụọ ọjọọ kwere n'otu eziokwu a (Nke bu na enwere otu Chineke) mana, okwukwe ha anaghi arụpụta otu nkwenye. N’ ezie, ihe odide a nke okwukwe nwere ike ikpali mmadu "ime nke ọma" mana, Ọ gaghi eme ka ndi mmụọ ọjọọ na eme nke oma." ihe niile ha ga-eme bu ima jijiji. Okwukwe na ọrụ, n'ezie enweghi njiko miri eme ma oli. Otu nkwekwe nwere ike irụputa ụdị dị iche iche nke omume. Okwukwe enweghi ike ipụta n'ọrụ! Site n'nchepụta nke nkwenye echiche okwu nke a na-enweghi azịza ya, onye Nkatọ a kwụsiri ihe omume ya ebe a.

Ihe ịru uka adighi ya na Jemes na ndi na-agu akwụkwọ ya anula arumuka nke a na mbu. Ọ bụ kpọmkwem ụdị ihe nchebe ndị mmadụ pụrụ ime mgbe ezi omume okpukpe ha na-esighị n'ezi ọrụ. Ha nwere ike ikwu, " okwukwe na ọrụ enweghi njikọ ọ bụla n'ebe ibe ya nọ n'uzo ahu ịsịrị na ha di, Jemes. N'ihi ya, akatọkwala idi ike nke okwukwe m n'ihi na a naghi m eme udi nke a na ụdi ihe a.

**2:20**. A pụrụ ịkọwa ihe Jems zara onye Nkatọ ahu n'ụzọ dị otú a: Olee udi arụmụka na-enweghị isi nke ahụ bụ!

Lee udi nzuzu ọ bụ imeya! M ka na-ekwu na ewezuga ọrụ, okwukwe gi nwụrụ anwụ. Ị ga achọ ịma ihe kpatara ya? amaokwu ndi a 21-23 sitere na Jemes iji gosipụta na ya ekwenyeghi na nkatọ okwu ahu. Nke a ka e mere ka ọ pụta ìhè n'ihe odide nke Grik site na okwu ngụ nke bụ " i na-ahu (*blepeis*) na amaokwu 22. Nke a na-egosi na o na-ekwu maka ndi mmegide ma ọ bụ ndi Nkatọ. Naani site na " ịhụrụ" (*horate*) nke amaokwu 24 ọ bụ na Jemes laghachiri n'ụbara nakwa n'ebe ndi na-agu akwukwọ ya nọ dika igwe.

**2:21** Iji kàtọ ihe ahụ o kwuru, Jemes họọrọ aha a kacha mara amara n'akụkọ ihe mere eme nke ndị Juu, ya bụ, nna ochie bụ́ Ebreham. Ọ họoro agwa a kacha asọpụrụ nke nrubeisi n'ebe chineke nọ, ịchu nwa nke ya n'àjà bụ Aisak. Ebe ọ bụ na a maara

nke ọma n'ógbè ndị Kraịst na e ji okwukwe kpọọ Ebreham onye ezi omume, Jemes na-agbakwunye ugbu a mmetụ pụrụ iche. A kpọkwara ya onye ezi omume site n'ọrụ! Mgbe isiokwu Jems doro anya, ọ dị mfe izere iji ya atụnyere Pọl onyeozi n'ụzọ na-ezighị ezi. E nweghi ụzọ Jemes ji chọọ igonahu na Ebreham ma ọbu ọnye ọ bụla ọzọ ga-abu onye ezi omume site naani n'okwukwe. Naanị ihe ọ na-ekwu bụ na e nwere ụzọ ọzọ e si akpọ ndị ezi omume, ya bụ, **site n'ọrụ.**

N'eziokwu, e nweghi udi ihe a dika otu nwere onwe site n'okwukwe tinyere orụ. O nweghi ihe Jemes kwuru ebe a kwadoro echiche a. Kama, e nwere ụdi abuọ nke nwere onwe (lee v24). ihe nke a na-agbagwoju ọtụtụ ndị anya, onyeozi bụ Pọl kwetara nke a. N'ide n'oge nke doro anya na ọ bụ mgbe oge Jems dere ya gasịrị. Pọl kwupụtara na Ndi Rom 4:2 'N'ihi na asi na aguru Ebreham n'onye ezi omume site n'ọlu, o nwere ihe inya isi; ma ọ bughi n'ebe Chineke nọ. ' Udi nkwuputa okwu nke a na Grik anaghi agonahu eziokwu a nke nọ n'okpuru okwu nke nchebara echiche. Nkebiokwu a "ma ọ bughi n'ebe Chineke nọ" na-ekwusi ike na Pọl nwere ike iburu echiche nke e nwere ike iji guo mmadu n’onye eziomume site n oru. Mana, ọ kwuputara na ọ bụghi ụzọ esi agụ mmadu n'onye eziomume n'ebe Chineke nọ. Nke a bụ ọ naghi ewulite ezi nguzo di mma n’ihu ya.

N’ihi ya, n’ịzaghachị ụdi mmadu nke nwara ịgọnahụ okwukwe site n'ọrụ n'ahumahu nke ndi Kraist, Jemes na-eji ụzọ dị mma abiakwute onye ahụ. Echiche ya ka e ji okwu ndị a kọwaa: " Ma ì nāchọ ka i mara, gi madu efu, na okwukwe bu ihe nādighi-aluputa ihe ma ọlu adighi ya? Èsiteghi n'ọlu gu Ebreham nna-ayi n'onye ezi omume, mḅe ọ churu Aisak nwa-ya nwoke n'elu ebe-ichu-àjà? [v 21] I huwo na okwukwe-ya soro ọlu-ya lukọ ọlu, esite-kwa-ra n'ọlu ahu me ka okwukwe ahu zue okè; [v22] N'ụzọ dị otú a kwa, e mere ka ihe Akwụkwọ Nsọ pụtara n'ụzọ zuru ezu banyere izi ezi ya site n'okwukwe pụta ìhè, n'ihi na ugbu a a pụrụ 'ịkpọ ya enyi Chineke' (v 23).

E kwesiri iji nlezianya mara na n’ịrutu aka n’àjà Ebreham ji nwa ya nwoke chụọ, Jemes laghachikwara n'isiokwu nke onwụnwa dị iche iche bukwanu ihe bu isi n'ozioma ya (lee 1:2-18). N’odinaala ndi Juu, akụkọ a banyere Ebreham nọchiri anya ule kasịnụ e lere nna ochie ahụ, nke o meriri n'ụzọ dị ebube. Ma n'otu aka ahụ, mgbe Jemes tụgharịrị uche n'ebe Rehab nọ n'amaokwu nke 25, ọ na-ekwu banyere nwanyị meriri ọnwụnwa siri ike. Akụkọ abụọ ahụ, na-eguzo na njedebe nke otu isi (1: 21 -

2: 26), na-atụ aro *inclusio* (ịtụ aka nke ihe gara aga) na-ebugharị uche onye na-agụ ya n'ebe isi mmalite ọnụnụ nke eziokwu bidorori. Okwu agbamume nke 1:21 agbasaala n'ike n'ike site na mmalite nkparita uka nke ọnwunwa di iche iche nke ndi Kraist.

**2:22-23**. Ihe ndi mejupụtara amaokwu ndi a juru eju n'eziokwu. Ọ bụ ihe nwute na ha a burula ihe a ghotahiere n'uzo buru ibu. Okwukwe nke na-eme ka a bụrụ onye ezi omume - Jemes anaghị agọnahụ na ọ na-eme ka a bụrụ onye ezi omume! - O nwere ike inwe ọru na nzube di mma na ndu nke onye kwere ekwe na-erube isi. Dị ka ọ dị n'ebe Abreham nọ, ọ pụrụ ịbụ ihe na-akpali mmadụ ime omume dị ukwuu nke nrubeisi.

N'iga n'ihu, a pụrụ ime ka okwukwe n'onwe ya **zuo okè**, ya bụ, “zuo okè” (*eteleiōthē*). Okwu Grik ahụ na-enye echiche nke uto na ntozu okè. N'ihi ya, ọ bụ ọrụ ka a na-eji azụlite okwukwe ma na-eme ka o sikwuo ike. Ọ gaghi abụ ihe dị mfe ichota ihe atụ kacha mma nke echiche okwu Jemes n'ebe ọ bụla na Baibul. Okwukwe Abreham nke e ji kpọọ ya onye ezi omume lekwasịrị anya ná nkwa Chineke kwere banyere mkpụrụ ya. (Jen 15:6). Nkwa nke na-emesi nkwa mbụ nke Jen 12:1-3, nke nwere njikọ miri emi na nzọpụta (lee Ndị Gal 3:6-9). Mana okwukwe Ebreham bụkwa okwukwe na Chineke nke mbilite n'ọnwụ (lee. Jen 15:6 na Ndị Rom 4:19-21 na Hib 11:17-19).

Obi siri Ebreham ike na Chineke, bụ́ onye o kweere na ya, nwere ike ime ka ahụ́ ya na akpa nwa Sera ghara ịnwụ. Ma ọ bụ nanị site n'ule ahụ e lere ya site na Aịzik ka okwukwe a doro anya o nwere n'ike Chineke nwere ịkpọlite ndị nwụrụ anwụ ghọrọ nkwenye siri ike na Chineke pụrụ ịkpọlite mmadụ n'ọnwụ n’ahụ́ iji mezuo iyi Ya.

E ji ọrụ mee ka okwukwe Ebreham sikwuo ike ma tozuo okè. Site ná nkwenye o kwenyesiri ike na Chineke pụrụ imeri "ọnwụ" nke dị n'ahụ ya (enweghị ike ịmụ ụmụ), o kwenyesiri ike na Chineke pụrụ n'ezie ịkpọlite nwa ya n'ọnwụ n’ahụ. N'usoro nke imezu iwu nke si n'eluigwe nke ịchụ nwa ya ọ hụrụ n'anya n'àjà, okwukwe ya toro ma ruo n'ogo di ọhụrụ nke obi ike n'ebe Chineke nọ.

N'ụzọ dị otú a kwa, Akwụkwọ Nsọ ahụ nke kwuru banyere izi ezi ya mbụ mezuru. Dị ka a pụrụ isi kwuo ya, ọrụ Ebreham mere ka akụkụ ihe odide oge ochie a jupụta n'ihe ọ pụtara, site n'igosi ókè okwukwe ya, bụ́ nke a kpọtụrụ aha na Jenesis 15:6, pụrụ isi zụlite ma kwadoo ndụ nke nrubeisi. Ọ bụ ezie na ọ dị mfe ma doo anya na mbụ, okwukwe ziri ezi nke Ebreham nwere ihe ndị pụrụ isi na ya pụta bụ́ ndị ọ bụ nanị ọrụ ya, ndị e wuru n'elu ya, pụrụ ikpughe.

Ma ugbu a, A ga-akpọ ya **enyi nke Chineke** ọ bụghi naani site na Chineke n'onwe ya, kama kwa site n'umu mmadụ (tulee 2 ihe emere 20:7 Aisia 41:8). Nke a bụ n'ezie, Aha e si na ya mara Ebreham kemgbe ọtụtụ narị afọ n'ọtụtụ ala nakwa n'ihe dị ka okpukpe atọ (nkendi Juu, Ndi Kraist na ndi alakuba). Ọ bụrụ na Ebreham egeghi Chineke nti n'ime ule Kachasi ukwu nke ndụ ya, ọ gaara abụ kwa onye ezi omume site n'okwukwe nke o gosiputara na Jen 15:6. Mana , site n'ime ka okwukwe ya *dịrị ndụ* site *n'ọrụ ya*, o nwetara utu aha ziri ezi n'etiti nde mmadu a na-agaghi aguta ọnụ. N'ụzọ dị otu a, a gụrụ ya n'onye eziomume site n'ọrụ ya. (n'ihu mmadụ; tulee Rom 4:2)

Mgbe e ji okwukwe kpọọ mmadụ onye ezi omume, Chineke na-anabata ya n'ụzọ na-enweghị atụ. Dị ka Pọl si kwuo ya, onye dị otú ahụ bụ onye " Chineke nāgu ezi omume nye ya mḅe ọ kālughi ọlu" (Ndị Rom 4:6). Ma ọ bụ nanị Chineke pụrụ ịhụ azụmahịa ime mmụọ a. Otú ọ dị, mgbe a gụrụ mmadụ n'onye ezi omume n'ihi ọrụ ya, ya na Chineke na-enwe mmekọrịta chiri anya nke *ndị ọzọ na-ahụ*. Mgbe ahụ enwere ike ịkpọ ya "enyi Chineke", dịka Jizọs kwuru, "Unu bụ ndị enyi m ma ọ bụrụ na unu emee ihe ọ bụla m nyere unu n'iwu" (Jọn 15:14; hụkwa mkparịta ụka nke Jemes 4:4).

**2:24** N'ihapụ okwu onye Nkatọ n'azụ, Jemes laghachiri n' amaokwu 24:26 iji gwa ndi na-agu akwụkwọ ya okwu ihu na ihu. (Lee Okwu na amaokwu 20.) Ihe o kwuru ebe a na-akwado ihe e kwuru n'elu (amaokwu nke 21). E nwere ụdị abuo nke ikpọ mmadu onye eziomume, ọ bụghi n'ụdị ọnọdụ nke hiwere isi n'okwukwe tinyere ọrụ. Ekwesiri igu okwu Jemes otu a. **Unu ahuwo na anēsite n'ọlu gu madu n'onye ezi omume, adighi-esite kwa** [naani ịgụ mmadụ n' onye eziomume] **nání n'okwukwe**. Ihe bụ isi na nghota nke a bụ nkwuwa okwu nke Grik bụ "naani" (*monon*), bụ nke na-anaghi akọwa (ya bu ikọwapụta) okwu bụ *okwukwe*, ebe ọ bụ na ọdịdị ya gaara

abụ *monōs.* Otú ọ dị, dị ka nkwuwa okwu, ọ na-akọwa ngwaa bụ́ *onye ezi omume* bụ́ nke dị n'ahịrịokwu nke abụọ. Ihe Jems na-ekwu bụ na e nwere ụzọ abụọ e si akpọ mmadụ onye ezi omume: otu bụ site n'okwukwe, nke ọzọ abụrụ site n'ọrụ. Ịkpọ mmadụ onye ezi omume site n'okwukwe bụ ihe na-eme n'ihu Chineke, ebe ịkpọ mmadụ onye ezi omume site n'ọrụ bụ ihe na-eme n'ihu ndị mmadụ.

**2:25** Nke a bụ n'ezie ihe a kowara ugbu a na njịkọta ọrụ nke Rehab. Jemes *ekwughi* "Ma n'ụzọ di otu a, Ọ̀ bụ na e siteghị n'okwukwe na n'ọrụ kpọọ nwanyị akwụna ahụ bụ́ Rehab onye ezi omume? Jemes amaghị banyere ezi omume dị otú ahụ. Kama nke ahụ, dị ka Ebreham tupu ya, **e sitere n'ọrụ** kpọọ **Rehab** onye ezi omume n'ihu ndị ọzọ, ya bụ, n'ihu mba Izrel bụ́ ndị ọ bịara biri n'etiti ha.

Otú ọ dị, Rehab ruru eru n'ụzọ magburu onwe ya ijikọta echiche Jems. Akụkụ Akwụkwọ Nsọ ahụ malitere site n'irụtụ aka n'isiokwu ya bụ́ "ịzọpụta ndụ"(amaokwu 14; 1:21). Ọ bụghi ihe iju anya, Rehab bụ onye a họọrọ dịka ihe atụ gbapụtara iche bụ onye ndụ anụ ahụ ya bụ nke "a zọpụtara" n'eziokwu n'ihi na o nwere ọrụ. Ode akwụkwọ nke (Hibru 11-31) na-arụtụ aka n'okwukwe ya ma na-emesi echiche okwu ya ike n'echiche bụ na ọ nabatara ndi nledo ahu. Jemes, N'ụzọ dị iche, Jemes na-ekwu na ọ bụ **ya... mere ka ha si n'ụzọ ọzọ pụọ**. Gini mere Jemes jiri mee ihe a? Azịza ya nwere nnukwu ihe ọ pụtara maka arụmụka Jemes.

Ọ bụ eziokwu na okwukwe Rehab malitere ịrụ ọrụ mgbe ọ nabatara ndị ozi ahụ, Ọ garaghi abụ n'ezie onye a gụrụ n'ezi omume n'ihi ọrụ ya ruo mgbe o mere ka ha si ụzọ ọzọ lawa. Nke a bụ eziokwu, ma ejiri nlezianya chebara akụkọ di na Joshua 2 echiche. Ọ bụna n'oge nke ikpeazu, o nwekwara ike ịrafu ndị nledo ahụ. Ọ bụrụ na ọ bụ ihe ọ chọrọ, ọ (Rehab) gaara ezipu ndi na-achụ ha ka ha chụsoo ha n'azu. Ndi nledo ahụ nwere obi abụọ zuru ezu banyere nguzosike nke Rehab bụ nke egosipụtara site n'okwu ha nke di na Joshua 2:20, " Ma ọ buru na i gosi okwu-ayi nka, ayi gābu kwa ndi ikpe nāmaghi n'iyi-gi nke i meworo ka ayi ṅua" I mana ọpụpụ nke gara nke ọma nke ndi nledo gosiputara na Rehab bụ n'eziokwu "enyi nke chineke n'ihi ọ bụ kwa enyi ha. N'uzo di otua, A guru Rehab n'onye eziomume site n'ọrụ.

N'ụzọ di otu a, ọ zọpụtara ndụ nke ya na nke ezinaụlọ ya. Okwukwe ya, n'ezie dị nnọọ ndụ n'ihi na ọ bụ okwukwe na-arụ ọrụ. Ọ bụ ezie na ọ bụ nwanyị na-akwa iko - ma ndị edemede abụọ ahụ e nyere ike mmụọ nsọ na-echetara anyị na ọ bụ - okwukwe ya dị ndụ meriri ihe ndị si ná mmehie ya pụta. Ọ bụ ezie na ndị fọdụrụ ná ndị bi na Jeriko nwụrụ n'ihi ikpe Chineke nke Izrel wetere na nmezu, nwanyị ahụ dị ndụ n'ihi na okwukwe ya *dị ndụ*!

**2:26** Jemes, n'ezie choro ka ndị na agụ akwụkwọ ya mara na ọrụ dị iche iche bụ n'ezie ihe ntute mmụọ nke na-eme ka okwukwe dị ndụ, n' otu ụzọ ahụ mmụọ mmadụ si eme ka ahụ mmadụ dị ndụ. Mgbe ọ bụla onye Kraist juru ịrụ ọrụ n'okwukwe ya, okwukwe ahụ na-ala n'iyi ma buru obere ihe kariri Ozu okwukwe. (*Onye kwenyere n'ozizi nke eziokwu, ma nwụọ anwụọ n'ime mmụọ*). "Nkwenkwe nwuru anwu" bụ ihe ize ndụ nke biakwutere ndi nke Kraist ma anyi mere nke ọma site n'ige nti n'ihe ize ndu nke a. mana, Ihe ngwọta ya bụ nke di mfe. Okwukwe na-esi ike ma dị ndụ ma ọ bụruhaala na asụgharia ya n'ime ezi ọrụ nke nrubeisi dị ndu.

B - Adịla ngwa ikwu okwu (3:1-18)

(1) IRE BỤ NGWA ỌRỤ JỌGBURU ONWE YA MAKA IGOSIPỤTA AMAMIHE (3:1-12)

**3:1** Na Chọọchị oge mbụ, nzukọ nke ndị kwere ekwe abụghị nke ana-anọkọkarị n'usoro etinyere n'iwu dị ka ofufe ụtụtụ nke ọtụtụ ndị maara taa. Na Kọrịnt (lee 1 Ndị Kọrịnt 11-14), ma ọ bụrụ na ọ bụghị na ụka niile, nzukọ ndị ahụ enweghị usoro (ma e wezụga maka Nri Anyasị nke Onyenwe anyị) ma megheere ụmụ nwoke nile ikwu ihe ọ bụla ha nwere n'obi, n'ihi okwukwe. Ụmụ nwanyị, n'agbanyeghị nke a, ka a gwara ka ha nọ jụụ n'oge ahụ (1 Kọrịnt 14:34–35). N'ọnọdụ dị otú ahụ, nwanna nwoke ọ bụla pụrụ ibili nye ndị kwere ekwe ntụziaka, ma ò ruru eru n'ụzọ pụrụ iche, ma ọ bụ nwee onyinye, maka ọrụ a. Jemes na-amalite mkparịta uka maka ire site n'ikwupụta isi ihe a dị mkpa: Ọ kwenyere na ọ bụghi ọtụtụ n'ime unu [kwesiri] ibụ ndị nkuzi. Ihe merenu? Ọ di mfe, nwoke nke ji ire ya akuzi ihe ga abu onye eweliri n'ụkpụrụ di elu, onye ikpe zuru ezu, dika n'oche ikpe nke Kraist, karia onye nke na-ejibeghi ire ya mee ihe.

**3:2** N'elu ihe nile, Jemes kwuru, "anyi niile na-asụ ngọngọ n'ọtụtụ ihe (dịka ọdi na amaokwu 1, okwu bụ anyi gunyere ma Jemes). Okwu Grik bu "zuru oke" bụ "teleoos" nke na-apụtaghi "enweghi mmehie" mana, ma eleghi anya n'ebe a ọ pụtara ihe dika "Enweghi ntụpọ" nke bụ, nwoke nke na-enweghi ntụpọ.

Mana dịka ngwụsi nke isiakwụkwo mere ka o doo anya, na ụdịri nwoke a anọghi n'ụwa, ebe ọ bụ na "ọdighi onye ọbụla pụrụ imeju ire anya" (amaokwu 8)

**3:3-4** Ugbua Jemes na-emeka ọ doo anya ikpa ike nke obere ihe a nke di n'ahụ mmadụ. Ọ bụ eziokwu na ikechi ire putara na mmadụ nwere ike ichikwa "ahụ ya dum" (amaokwu 2). N' òtu ụzọ ahụ, ***anyi si etinye ihe ntuchi n'ọnụ ịnyinya ahụ dum***. n'ụzọ dị otú a, na-enwe ike ịchịkwa **aru-ha dum**. Nakuku nke ọzọ, ugbo ndi buru ibu bụ nke **oké ifufe** na-achikwa site n'ihe mgbakwunye dị obere dị n'ahu ya; **umara isi-ugḅọ dikarisiri ntà**. Ya mere nnukwu ụgbọ, dika inyinya, bu ihe mmadụ na-achikwa ma na **nēchighari** … **ebe ọ bula uche onye-isi ubọ nāchọ** site na ngwa ọrụ dịkarisiri ntakiri. Ruo ugbu a, Jemes mesiri ike nanị ikike ire nwere dị ka obere "mkpịsị" ma ọ bụ "ihe nduzi" nke pụrụ ịchịkwa "ahụ nile" nke mmadụ (amaokwu nke 2). Nke ahụ bụ ikwu, ụmụ mmadụ nwere ike ịchịkwa omume ha ma ọ bụrụhaala na ha buru ụzọ nwee ike ịchịkwa "ịnya," ire mmadụ.

**3:5** Na ntule nke ike ire na akpa dịka "onye nchikwa nke agwa, **ihe ntà** di n'ahụ na-anya isi n'oke ihe (**ọ nānya kwa isi oké ihe**). Okwu Grik nke ahịrịokwu ikpeazụ a sụgharịrị bụ megalauchei (dị ka ihe ka ọtụtụ n'ihe odide si kwuo) ma na-enye echiche na-adịghị mma nke ịnya isi dị mpako. Ihe ịrụ ụka adịghị ya na Jemes kpachaara anya họrọ okwu a n'ebe a. Nye ya, amaokwu a bụ n'ezie nkwupụta mgbanwe nke na-agagharị site n'ịtụle ihe ire "pụrụ ime" (amaokwu nke 3-4) kama n'ihe ọjọọ ọ pụrụ ịkpata (amaokwu nke 5b-6). Ọ dịka a ga-asi na, mgbe ire "kwuru okwu" maka ịnya isi n'oke ihe ọ gaghi ewezuga onwe ya site n'itu ọnụ gbasara ha. Onye ọbụla nwere ike ichọpụta agwa ndia n'onwe ya, maka onye n'ezie ga-ekwu maka ihe ndị ọ ruzuru ma ghara itinye mpako ma ọ bụ itu ọnụ?

Mgbanwe nke ntule echiche na-ezighi ezi nke ire malitere site na nkwupụta okwu bụ *ọ na-anya kwa isi n'oke ihe* ma na-aga ngwa ngwa iji ire **tụnyere ọku dikarisiri ntà** (anyị nwere ike ịsị: ntakịrị ọkụ ma obu ihe ntinye ọkụ) nke na-eduga n'inwusi

okụ ịke n'**óké ọhia**. Ugboro ole ka okwu ụfọdụ a na-ekwu n'echeghị echiche kpalitere oké nsogbu n'ahụmahụ ụmụ mmadụ!

**3:6.** Ya mere, a pụrụ ikwu n'ezie na **Ire bu kwa ọku** ma ọ bụ, ikekwe ọ ka mma, "ire bụ ọkụ". Iji ire egwu egwuregwu na-ejighi nlezi anya dị kwa ka iji ọkụ egwu egwuregwu n'ụzọ dị njọ. N'ihi gịnị? Ọ bụ n'ihi na ire **bú uwa ahu nke ajọ omume**. Nkebi okwu nke Grik ebe a (ho kosmostes adịkiass) nke nwere ike ipụta "ụwa nke ajọ omume juru" na -ekwupụta na ihe bụ isi kpatara ihe ọjọọ n'ụwa na-aputa ihè n'ime ihe dikarisiri nta, jọrọ njọ dị n'ahụ mmadu. Ọ nweghi ụdị ihe ọjọọ ma ọlị, nke na-enweghi ike ijikota na ndụ mmadu site n'ọnya ọkụ a dikarisiri nta.

Nke a bụ ótú ire si arụ ọrụ n'ahụ mmadu. Okwụ ndị bụ **ire nēguzo** ma eleghi anya na-arutu aka n'akuku nke mbu nke amaokwu a. Ihe bụ KJV na NKJV, ótú ọ bụla o si dị, were ha dịka ntụaka di n'ihu nke na-eso ma na-akowa okwu *ahụ* n'ime edemede. Mana, e nweghi ihe ọ bụla dị na Grik nke a ga-eji tunyere okwu bu *ahụ* na kwa nkwuputa okwụ nke fọdụrụnụ na-adika ihe ziri ezi nke a ga-eji kowaa banyere "ire". Ọ ga a ka mma ka a sugharia ya. Ọ bụ otụ ahụ kwa; ire na-eguzo n'etiti ihe niile di anyi n'ahu, dika ihe na-enye ahụ dum ntupọ nke na-afunwu kwa na-aga. Okwu maka guzo bụ kathistatai, nke nwere agwa na-agbanwe agbanwe na asụsụ Grik; ebe a ọ nwere ike ịpụta ihe dịka "na-arụ ọrụ ya.". Ihe Jemes na-ekwuputa bụ na ire na-aru ọrụ dika ọkụ jọrọ njọ nakwa nke "ụwa nke ajọ omume" (lee akụkụ nke mbụ nke amaokwu a)

Ka a sịkwa ihe mere ọrụ ire na-arụ ji eme ka ọ bụrụ otu n'ime akụkụ ahụ́ **nke nēnye aru dum ntupọ, nke nāfunwu kwa ihe nāga dika amuru ya ọku**. Site n'okwu mmadụ na-ekwu, ọ pụrụ ịdị ya ka ọ bụ onye na-adịghị ọcha; Ọzọkwa, okwu nwere ike iduga n'omume anụ ahụ nke na-emerụ mmadụ ahụ dum, dị ka mmehie dị ka ịkwa iko nke ndị lụrụ di ma ọ bụ nwunye ma ọ bụ ndị na-alụbeghị N'itinyekwu ihe, okwu mmadụ agaghi abu naani ihe na-eduga n'imeru ahu dum, kama kwa, ha nwere ike itinye ọkụ n'ihe omume niile banyere mmadu site ihe ọghọm ọ na-amipụta.

**3:7-8.** N'ihi otú e si kọwaa ire n'ụzọ na-adịghị mma n'amaokwu nke 6, mmadụ pụrụ iche na a pụrụ ịchịkwa ngwá ọrụ dị otú ahụ dị ize ndụ kpam kpam. O di nwute na nke a abụghị otú ọ dị,

N'ezie, umu mmadu enweela ihe iga nke oma n'ịzụlite ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ udi **anu na anu-ufe, nke ihe nākpu akpu na ihe di n'oké osimiri**, Ọ dịghị onye nweworo ụdị njide ahụ n'ebe ire dị, ebe obu **n'odighi onye ọ bula n'etiti madu puru imeju ire anya.**

N'ụzọ ziri ezi, ọ bụ n'ihi na a pụghị ịchịkwa ya n'ụzọ zuru ezu mgbe anyị ka nọ n'ime ahụ anyị**, ka ire ji bụrụ mmụọ ọjọọ nke na- enweghị nchịkwa , nke jupụtara ná nsí na- egbu egbu.** Ndi Kraist kwesiri icheta n'oge nịịle na ihe ha bu n'ọnụ ha bụ ihe enwere ike iji tụnyere agwo ojọọ nke dị ntakiri na-egbu egbu nakwa ngwa ọrụ nke agwọ a nwere ike imetụta ndị ozo ruo n'ogo nke ikpata ọnwụ ha (dika ihe atụ, ikwa emo nke onye gburu onwe ya), Ebe ọ bụ na Onye Kraịst apụghị iche na e jichiri "agwọ" ahụ kpam kpam, ọ dị mkpa ịnọ na nche mgbe nile iji chebe onwe ya pụọ n'oge ọ kasị ebibi ihe.

.

**3:9-10.** Ọ ga-anọ na nche megide ihe ndaputa ọjọọ na-esina ya apụta. N'otu ọnụ ahụ **nāgọzi Onye-nwe-ayi, bú Nna-ayi;** n'abụ ma ọ bụ n'ekpere nke otuto, nwere ike **ịbụ** (ma kwụọ ihe ọjọọ) **mmadu ọnụ** (ọ bụnadi ụmụnna bụ ndi Kraist) n'agbanyeghi na ha bu **ndi ekèworo dika oyiyi Chineke si di** onye kere ha n'oyiyi ya. (Jen 1:26-27). Baibul anaghi akuzi na oyiyi Chineke aburula *ihe ewepuru* n'odịda nke mmadụ, otu ọ bula o si di karia, ọ bụrụla nke emebiri site na mmehie. Ya mere **n'otù ọnu ahu** nwere ike ibu isi nke **ngọzi na ọbubu-ọnu si puta** -mgbe ufọdụ site n'ikwu okwu ngwa ngwa nke ngafe ya ga-abu naani oge ole na ole ma gafere banyere n'otu n'ime okwu nke asusu gaa na nke ozo. N'ikwu okwu n'ezoghị ọnụ, Jems gwara ***ụmụnna ya*** bụ Ndị Kraịst na **o kwesighi ka ihe ndia di otú a.**

3:11-12, N'iganihu, udi akparamagwa a site n'ire abughi ihe kwesiri ekwesi. "o kwesighi idị otu ahụ (Amaokwu 10) N'ihi na ọ na-emegide usoro na omume ndị a na-ahụkarị na okike. Dị ka ihe atụ, **isi-iyi** adịghị ***asụpụta*** **miri nātọ utọ na miri nēlu ilu** n'ụzọ na-ekwekọghị ekwekọ. Ire abughi naani na o na-agbanwekarị

(amaokwu nke 11), kamakwa ọ na-akpa àgwà megidere ihe a na-atụ anya ya. Ọ dịghị onye na-atụ anya inweta **mkpụrụ oliv n'osisi fig**, ọ dịghịkwa onye na-achọ **mkpụrụ fig** n'osisi **vaịn**. Mmadu o kwesiri iche na ọnụ anyi e kere nke oma iji wee gozie Chineke na nna, ga-abukwa nke eji ewepụta ihe ọjọọ nke mmadu "bu ndi ekere n'oyiyi Chineke" (Amaokwu 9)? Mana, N'oge niile, ihe a, na-ezighi ezi bụ eziokwu, obunadi n'ebe ndi Kraist no.

Jems mechiri ịdọ aka ná ntị ya banyere ire, bụ́ nke a na-apụghị ịchịkwa achịkwa, site n'ikwu banyere **isi iyi** ọzọ. Mana okwu mmechi a bu ihe dịtụrụ iche site na nke mbụ e kwutara na amaokwu 11. Ndị bi n'ala kpọrọ nkụ nke dị n'Etiti Ebe Ọwụwa Anyanwụ Ụwa ma uru ezigbo mmiri iyi bara.  Ihe mere Jems ji kwuo banyere mmiri nātọ utọ na nke na-elu ilu bụ nke metụtara uto mmiri ahụ. Mmadu nwere ike inwe obi ụtọ mgbe o na-aṅụ mmiri iyi, ma ọ bụ na ọ gaghị enwe obi ụtọ, kama ọ ka nwere ike ị ṅụ ya ma ọ bụrụ na ọnọdụ ahụ enweghị olileanya.ma **miri nātọ utọ na miri nēlu ilu** bu nke puru iche n'udi nke ya, Ma umụ mmadụ na ụmụ anụmanụ pụkwara ịdị ndụ site n'ịṅụ mmiri na-atọ ụtọ, ma ọ bụghị site na nke na-elu ilu. O bụghi naani na ire (na-adighi ka mmiri iyi). na-emeputa okwu ndi di mma ma okwu ndi na-adighi mma ( nke nātọ utọ na nke nēlu ilu) kama ọ na-emepụta okwu ndị nwere ike imebi ịhe (miri nēlu ilu) na okwu ndi nwere ike ịchekwa ndu (miri nātọ utọ). Ọ bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ ya ejiri ire ha mee ihe gabiga ókè, ha pụrụ ịdị na-atụ anya ma ihe ndị na-adịghị mma ma ndị na-adị mma n'ime ihe ndị ga-emetụta ọtụtụ ndị. Onye dere Ilu (18:21) kwupụtara echiche a nke ọma:. Ọnwu na ndu di ire n'aka; Ọzọ, ndi nāhu ya n'anya [ire] gēri nkpuru-ya. (ọnwụ na ndụ).

## 2 AGWA DI NSỌ BU ŃGWÁ ỌRỤ NCHEKWA MAKA IGOSIPỤTA AMAMIHE (3:13-18)

**3:13.** Aro Jemes tụrụ doro anya ma bụrụ kpọmkwem. È nwere onye n'ime ha bu **onye-amam-ihe nke nāghọta kwa ihe**? Ụzọ esi egosipụta eziokwu a bụ site ***n'agwa dị mma***. Dị ka o kwesịrị ịdị ụdịrị agwa a bu nke a ga-akowaputa site n' **ọlu**, dịka Jemes burula uzo gọsịpụta ya (1:21-2:26). Otú ọ dị, NKJV na-agbagọtụ ihe odide ahụ site n'itinye ***nke ahụ*** nke e dere n"ụdị italiki nke na-adịghị mkpa. Ọ ka mma isughari ya, "ya gosi (ngosipụta) oru ya site ibi-obi oma ya n'ime ịdị nwayo (enwetara site) na amamihe. Káma iji obi ike (na ụzọ mpako) na-ekwupụta amamihe

nke ha chere na ha nwetara. A gbara ndi na-agụ akwukwo Jemes ume ka ha gosipụta ya site ụdị ndu ha na ebi site kwa na mmụọ di nwayo. (*prautēti*, **idi nwayo**) nke bụ ihe e ji ama onye nwere ezi amamihe. Dị ka Jizọs kwuru, ọ bụrụ na ọ kụziere ndị kwere ekwe, ha ga-amụta ịdị nwayọọ (praos); (Mat 11:29).

**3:14.** Mana idị nwayo bụ nke na-adighi kpamkpam, ọ pụtara íhé, n'ufọdụ nzụkọ nke Jemes na-agwa okwu (lee 4:1-2). Jemes, n'ezie, na-adu ha ọdụ na ọ buru na ha nwere **ekworo di ilu na ikpa-iche-iche n'obi-**ha, mgbali ọ bụla emeree iji gosipụta amamihe chineke ga-abu ihe dịka okwu-ugha **megide ezi-okwu.** Okwu asụgharịrị bụ *ịkpa iche iche* (*eritheia*) ọ bụ ezie na ọ dị ụkọ tupu oge (Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ), ọ nwere ike na-egosi ụdị mpako nke a na-egosipụta site n'ọchịchọ nke ịka ndị ọzọ. Ndị Kraịst bú ndị na-achọ ịnọ n'ọkwá dị elu n'ime nzụko karịa onye ọzọ, bú onye ha na-enwere anyaụfụ, na-achọkarị ọkwá dị elu nke ga-eme ka ha nwee oké ọchịchọ anụ ahụ́ a.

Ikpa agwa n'uzo Jemes na-akowa bụ ịnya isi na ịgha ụgha megide eziokwu. Ngwaa Grik bụ "inya isi" (*katakauchasthe*) bukwa ọtu okwu eji mee ihe na 2:13 gbasara ebere imeri ikpe. O yiri ka ihe ọ pụtara ebe a ọ̀ bụ otu ihe di ka. Mmadu nke jigidesiri eziokwu nke chineke ike ma were ya mere ńgwá ọrụ nke iji mejuo ekworo na ịkpa iche iche nke ya, dika ọ na azọrọ na ya na-akụzi eziokwu ahụ, bu onye ikpe nke imeri eziokwu mara, Nke a bu, o ji mpako na-azọda eziokwu n'ala dịka ọ bụ ihe agbakwụnyere n'echiche nke onwe ya iji mezuo ochicho ya.

**3:15.** Ọ bụrụ n'ụzọ dị otu ahụ ka onye ga-abu onye nkuzi si na-agbali igosi amamihe ya (lee amaokwu 13) Ọ bụ onye eduhiere. O na-egosi udi amamihe niile, mana ọ bụghi ụdi nke o chere. **Amam-ihe a**, ka Jemes kwuru, abughi nke si n'elu ridata, kama o bụ **nke uwa, buru kwa nke nkpuru-obi madu nāchi, buru kwa ihe ndi-mọ ọjọ nēzí.**

**3:16.** N'ụzọ bụ isi, ebe ọ bụla **ekworo na ịkpa iche iche** na-arụ ọrụ n'etiti ndi kwere ekwe, n'ebe ahụ ka enwere ihe ọghom abụọ a na-agaghi agbanahu mgbe niile. Otu n'ime ha bụ ***ọgba aghara.***( *akatastasia*, enweghi nhazi "enweghi nchikwa") na nke ọzọ bu **omume nile ọ bula nke nādighi nma** (pragma, " omume,” “ihe omume”)

Lee ka okwu a sitere n'ike mmụọ nsọ siworo bụrụ eziokwu Ọtụtụ mgbe n'nzukọ ndị mmadụ ji ekworo ma ọ bụ oké ọchịchọ na-achọ ịbụ ndị ama ama! N'ụzọ a na-ahụkarị, nzukọ ebe ihe ndị a na-eme na-enwe ọgba aghara na ịkpa iche iche, a na-ekwukwa ma na-eme ihe ọjọọ ndị na-ekwesịghị ịdị n'òtù Ndị Kraịst. N'ụzọ dị otu a, a na-ahụ ọrụ Setan nke ọma

**3:17.** N'ime oke ọdịiche dị n'ihe ndị a niile, amamihe si n'eluigwe nke eziokwu na-egosipụta onwe ya: **Ma amamihe ahu nke si n'elu bia**. Njirimara bụ isi nke amamihe a si n'elu bụ n'ezie na ọ dị *ọcha*. O nweere onwe ya puo na agwa mmeru nke *ekworo na ịkpa iche iche* (amaokwu 16) o bụkwa nke a na-amata site n'ezigbo ofufe n'ebe Chineka nọ. Dika ihe si na ya pụta, o dịkwa ụdọ (*eirēnikē*) ọ bụ n'ezie ihe metutara idi na otu nke dị n'etiti ụmụnna. Mana, ọdidi nke udo nke ịhụnanya mekwara ka udi amamihe a di nwayo ("obiọma", *epieikēs*) nakwa **nēkweye okwu nke-ọma** (irubeisi *eupeithēs*). Udi obioma a na nrubeisi a putara n'udịrị amamihe a anaghi eji aka ike adabere n uzo nke onwe ya, kama, ọ dị njikere n'uzo amara site imeghe nke ya maka ndi kwere ekwe ndị ọzọ Agwa atọ ikpeazu nke pụrụ

iche (ọ dị udo, obioma na nrubeisi) ha niile malitere site akwụkwọ ozi Grik bụ episilon (e) Ha nwekwara otu udi ụda na mbido okwu mgbe ọbụla etikọtara ha onụ dika Jemes si hazie ha ebe a. Ha na akowakwa njirimara nke na apụtakari n'otu mgbe n'ime mmadu.

Mana, o bụrụ na idị nsọ, ime udọ, obioma na irubeisi adịrị n'ihe ndepụta nke Jemes, o ga-abu n'eziokwu na amamuihe nke si n'eluigwe ga-abu nke **juputa**ra **n'ebere na ezi nkpuru, nēnweghi obi-abua, nēnweghi iru-abua.** onye na-agụ akwukwo nke na-ege nti nke ọma ga anụ ụda n'ime okwu ndia nke isiokwu mmalite dị na akwukwo ozi nke a. "Ebere" na-echetaghachi 1:27 na 2:13 ezi nkpuru na-ada ụda 1:22-25 na 2:14-26, ebe "enweghi obi abụọ na-echetara anyi 2:1-13 (Ọ bu ezie na okwu Grik ebe a dị iche n'ebe nke dị na 2:1). E nweghi "ihu abụọ" na -adapụta uda n'ihe odide dị nso, n'uzo puru iche na amaokwu nke 14. Na nkenke na njikota nke mkpụrụ agwọ ano mbu, nke a bụ njirimara nke "ezi agwa" (amaokwu 13) nke na-egosipụta amamihe mmadụ n'uzo nke bu na okwu n'onwe ha enweghi ihe a a-eji ya me.

**3:18.** Onye nke na-akpa agwa dika amaokwu 17 kọwara so n'etiti **ndi nēme udo**. (Nsughari bu -site n'ebe ndi na-eme udo [*tois poiousin eirēnēn*] were *poiousin* dịka ihe ntinye nke oje ozi (site) kama ibu nke uru (maka). Ihe ntinye nke oje ozi bụ nke a hụrụ na mmalite. N'ime isi akwụkwọ nke a na nkebiokwu asughariri "site n'ụmụ mmadụ di na amaokwu nke 7.) O na enyekwa echiche kacha mma ebe a) N'ihi ya, dika onye na-eme udo, onye nke na egosiputa amamihe nke si n'eluigwe nke di n'ama okwụ 17 dị ka onye na - agha mkpụrụ n'ubi, Omume ya (mkpụrụ ya) *na-amịpụta ezi omume* n'ikpeazụ, ebe ọ bụ na ezi omume n'etiti ndị kwere ekwe na-eto ma na-eme nke oma mgbe ha na-ebikọ ọnụ *n'udo*. N'ichebara mmetuta Jemes nwere echiche maka udo nke ogbako (tulee 4:1-3) ọ ga-abụ eziokwu na nkebiokwu *na udo* gakotara n'ezie site na nkebiokwu bụ **mkpụrụ nke eziomume**, kama ịbụ *ihe akuru aku* dika ọ di na NKJV (nke a bụ, nkebiahiri e kwesiri igụ "mkpuru nke eziomume n'ime udo ka akuru site...)

C. Adila Ngwa Iwe Iwe (4:1-5:6)

(I) Ana-enweta iwe site na mmụọ nke ụwa (4:1-5)

**4:1** Gini n'ezie bụzi ihe kpatara **ibu-agha na ilu-ọ̀gù** n'etiti ndi na-agu akwụkwọ ya? Olee ebe ha **sị bia**? Aziza ya pụtara ìhè ma zie ezie. Ụdị ọgba aghara a na-ebilite, Jemes kwuru "site na agụụ maka **ihe-utọ nile** nke **unu**. NKJV nwere echiche ziri ezi ebe a, ọ bụrụgodi na o nweghi okwu Grik kwekọrọ na mkpụrụokwu niile nke bekee bụ <u>aguu maka</u> Mana nkwupụta okwu nke Jemes mere ka okwu bụ "ihe ụtọ" pụta ìhè, nke bụ na ihe ụtọ ndi a" ga-abu ndị agha na - emegide anyị nke na-ebu **agha** n'etiti ndi na-agu akwụkwọ ya. ya bụ, **di unu n'aru**,

(anụahụ).

Gini mere ndi Kraist ji alurita agha *n'ebe ibe ha nọ*? Ọ bụ n'ihi na ha nwere ahụmahụ agha n'etiti onwe ha" dika mkpali siri ike nke ihe ọma na ihe ọjọọ na-alụrita ọgụ n'ebe ibe ha nọ!

**4:2.** A na-atụle ndụ ime mmụọ ha nke jupụtara n'ọgba aghara ugbu a n'ihe banyere ọdịdị ya na-akụda mmụọ. **Agu nāgu unu, ma unu enwegh:** Ihe ha chọrọ abụghị ihe

ha nwere ike inweta**. unu nēḅu madu,** ***ma, na- enwekwa anyaukwu*****, unu apughi kwa ihu ihe unu chọrọ.** Ọ dịghị ka James na-ekwu na ndị na-agụ akwụkwọ ya n'ezie gburu mmadụ, kama, dị ka Onyeozi Jọn na-ekwupụta,, "Onye ọ bula nke nākpọ nwa-nna-ya asì bu oḅu-madu" (1 Jọn 3:15).

N'ekworo ibu iro n'ebe ufodụ nwanna nwoke ma ọbụ nwanyi ndi na-agu akwukwo Jemes bu ndi ikep mara nke ịcho ka ewepu ya (Ọ dị nnọọ ka ọ nwụrụ anwu). N'otu mgbe ahu na-enwe ọchịchọ n'ihe ha nwere olileanya *inweta* ma ọ bụrụ n'ezie na ọ nwụọla. Mana, ebe o bu na mmụọ igbu mmadu nke a agaghi abia na mmezu (ihe ize ndu di ukwuu, ihe ihere di ukwuu, mmehie di ukwuu wdg). o mere ka nkụda mmụọ nke ndị na-agụ ya ka njọ. N'agbanyeghị igbu mmadu n'uche ha na oké anyaukwu ha, a hapụrụ ha ebe ha si malite. Ha enwetaghị ihe ha chọrọ. Nanị ihe fọdụrụ bụ ịnọgide na-enwe esemokwu nwanne na nwanne n'akụkụ ya nile na-adịghị mma: n'ihi ya, ka Jemes na-ekwu, **unu nālu ọ̀gù, nēbu kwa agha.** N'ihi oké nkụda mmụọ ha, ka James na-ekwu, ha nọ na-eme ka chọọchị ha ghọọ ebe a na-alụ agha. Mana, dikwa ka ochicho nke onwe ha si joo njọ, ọ bụkwa otu ahụ ka omume ha si jọọ njọ n'ihi na ha achọghi ịgakwuru Chineke maka igboro ha mkpa ha**: unu enweghi, n'ihi na unu ariọghi.**

**4:3.** N'aka nke ọzọ, mgbe ha na-**nāriọ**, arịrịọ ha bụ n'ụzọ na-ezighi ezi. (mkpụrụ okwu ndị bu **unu nāriọ n'obi ọjọ** bụ kwa otu ihe ahu dị ka "unu na-ariọ n'ụzọ di njọ." ebe "n'uzo dị njọ" sugharịrị okwu Grik bu *kakōs*.). Aririo ha dị njọ n'eziokwu n'ihi na ha na-acho ọdịnma nke onwe ha. Ihe ọ bụla ha na-ariọ Chineke maka ya, ha na-acho i**mefu ya n'ihe ụtọ nke** ha. Nkebiokwu nke a bu nke doro anya. Site iji okwu bụ "imefu (*dapanēsēte*) Jemes gosiri n'ụzọ doro anya na ihe ọma ha na-arịọ n'aka Chineke agaghị adịgide; ha ga-agwụ n'oge na-adịghị anya. Ha agaghị enwe uru na-adịgide adịgide ma obu nke na adite aka. N'ijịkota okwu bụ *imefu* ebe a, okwu bụ *ihe ụtọ* na-ekwuputa ụtọ na-adịghị adịgide si n'ụzọ mmehie (Tụnyere ojiji okwu a dị mfe n'ahịrịokwu nke 1 ka ị ghọta ọdịiche ya) Ka a sịkwa *ha enwetaghị* azịza n'ịrịọ ụdị arịrịọ a!

Mgbe Jemes na-ede *unu anaghi arịọ* ihe o bu n'obi bu aririọ ndi ọ bụrụ na a zaa ha, ga-egbo mkpa ndị bụ isi nke ndị na-agụ ya. N'ime aririo ndị ozo ziri ezi, Ha kwesiri ịna-arịọ maka udo na ịdị n'otu n'etiti ụmụnna nakwa ịrịọ ka ọgba aghara kwụsị na

nzụkọ. Ma mgbe Jemes na-edekwa, *unu na-ariọ ma unu adighi anata*, ihe o bu n'uche bu ekpere na-ezighị ezi nakwa nke na-adighi n'amamihe. Ekpere *nwere ike* ibute imezu mkpa anyị, ma ọ *gaghị eme* ka Chineke nabata agụụ onwe anyị na-enweghị isi.

**4:4.** N'agbanyeghị na Jemes nwere ike inwe nkụda mmụọ nke ukwuu mgbe o lechara ọnọdụ a (ahịrịokwu 1–3), ọ bụghị ihe iju anya na o gara n'ihu itipụta mkpu , kpọọ ndị na-agụ ya ndi **nākwa iko**. Dị ka okwu "igbu mmadụ" (n'ahịrịokwu nke 2), Jemes, ma eleghi anya, anaghi ekwu okwu n'ụzọ putara ìhè. Ihe na-akpali ya bụ ekwesịghi ntụkwasị obi nke putara ìhè n'ebe Chineke nọ nke ndị na-agụ akwụkwọ ya gosipụtara site n'ịchọ ibu **eyì nke uwa.** Dị ka a ga-ahụ n'akụkụ ndị sochiri na isiokwu ahụ, ụfọdụ n'ime ndị na-agụ akwụkwọ ya nwere mmasị ịnya isi banyere achụmnta ego ha (4:13-16). Site n'ime otú ahụ, ha gosipụtara mmụọ nke ịhụ ihe onwunwe n'anya na nke ụwa n'ụzọ jọgburu onwe ya.

N'eziokwu, Jemes e burula ụzọ dọọ ndi na-agu akwụkwọ ya aka na nti banyere uru dinu nmadu idebe onwe-ya nēnweghi ntupọ site n'uwa" (1:27). Ihe sochịrị ịdọ aka na nti a ngwa ngwa bụ ịba mba megide omume na nzukọ ndị kwere ekwe, nke na-eme ka onye ọgaranya dị elu mgbe a na-eweda onye ogbenye ala. (2:1-7). Ihe anyị na-ahu n'akwụkwọ ozi James bụ na ọtụtụ ndị Kraịst nọ n'oge ahụ na-achọkarị akụnụba, na-achọ iso ndị bara ụba na-akpakọrịta, ma na-achọkwa ka ha nwee nnukwu akụ. Ma ụdị ndụ a bụ nke ụwa, ọ bụghị nke Chineke. James jụrụ ha, "Unu amataghị na *ibu eyì nke uwa* **bu ibu onye-iro nke Chineke**? Ọ̀ bụ na ha amaghị na **onye ọ bula nke zubere ibu eyì nke uwa nēdo onwe-ya onye-iro nke Chineke?**

N'ọtụtụ ebe n'Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ, e ji okwu a *ụwa* (*kosmos*) akọwa usoro maọbụ ihe na-emegide Chineke nke Setan na-achị ma na-eji mee ka ndị mmadụ ghara iso Chineke. (dịka, 1 Ndị Kọrint 1:20-21; 2:12; Ndị Galeshia 6:14; 2 Pita 1:4; 1 Jọn 2:15-17; 3:1; 5:19) ihu aku n'uba n'anya, omume rụrụ arụ, na ísì ime mmụọ bụ ihe niile mejupụtara ajọ ụwa nke a, ha na-emegidekwa mmasi na nzube Chineke maka ụwa. Jemes na-emesi ya ike ebe a (dịka ọ di na Jon na 1 Jon 2:15-17) na mmadụ enweghi ike ibu onye dị mma ma n'ebe Chineke no ma n'ebe uwa nọ. Mmadụ aghaghị ịhọrọ akụkụ ọ nọ na ya n'ezie, mgbe mmadụ họkwaara ịbụ *enyi nke ụwa*, ọ na-ahọrọ ozugbo ịbụ *onye iro nke Chineke*. Ọ họrọla ibụ onye mmegide n'ebe onye

kere ya na onye mgbapụta ya nọ. Nke a bụ ihe dika -mgbe nwoke lụrụla nwanyi kpebrii imikpu n'ime omume rụrụ arụ n'ebe nwanyi na-abughi nwunye ya nọ. N'ime mkpebi ahụ kpọmkwem, ọ họọrọ ịjụ ikwesị ntụkwasị obi nye nwunye ya. N'ịchọ inwe mmasị n'ụwa na ọnọdụ dị elu, Ndị Kraịst na-agụ Akwụkwọ Jemes na-etufu mmekọrịta ha na Onye-nwe ha ma na-akwa iko ime mmụọ. O nwere ike igbagwoju ọtụtụ n'ime ha anya ịnụ ya n'uzo dị ọtu a, Mana ebumnuche James bụ ịkpọte ha na omimi dị mwute nke okwukwe na nsọpụrụ ha na adakpu.

**4:5** James chọrọ ka ha ghọta na Chineke anaghị ewere ụdị enweghị ntụkwasị obi dị otú a n'ime obi mmadụ dị ka ihe na-adịghị mkpa. N'ihi ya, ọ na-echetara ha na ọ bughi **n'efu** ka **akwukwọ nsọ nēkwu** na mmụọ Chineke na-ekwo ekworo n'ebe ndị kwere ekwe no. Nke a bụ n'ezie ihe, ihe odide a pụtara, ọ bụ ezie na o nweghi otu akwukwo nso nwere kpọmkwem okwu ndi Jemes jiri mee ihe ebe a. N'agbanyehi ya, eziokwu ahụ bụ na chineke bụ Chineke ekworo bụ nke a maara nke ọma site n'akwụkwọ nso (dịka, Ọpụpụ 20:5; 34:14). N'ihi ya, a pụrụ ịhapụ mkpuchi okwu dị na NKJV (Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ Grik enweghị ihe ngosi dị otu a) a pụrụ ilekwasịkwu okwu James ebe a anya dịka ntụgharị okwu nke eziokwu Baịbụl a kọwara ya n'ụzọ kwekọrọ na Okwu Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ. N'aka nke ọzọ, n'ihi na okwu Grik ahụ enweghị okwu dị ka *hoti* ("na") n'azụ okwu *na-asị*, o na-enye mmetụta na James na-akpọtụ uche n'ihe ndi edere ede. N'uzo dị ọtu ahu, ebe e si nweta ihe ahụ ọkpọtụrụ uche bu nke a na-amaghi, Ma ọ pụkwara ịbụ abụ otuto Ndị Kraịst ma ọ bụ amụma. ọ ga-abụ n'eziokwu na okwu ndi a wetakwara echiche nke ihe Akwụkwọ Nsọ kuziri ma burukwa n'ezie nke a haziri ahazi dika ihe Akwụkwọ Nsọ kwuru.

Eziokwu di n'agba ochie nke si na Chineke bụ chineke ekworo bu nke ejikotara site n'eziokwu nke agba ohuru bu na **"Mọ Nsọ Nke bi nime ayi"** " mana, ebe ọ bụ na Mmụọ Nsọ bụ chineke, Ihe e nwere ike ikwu maka Chineke bukwa ihe e nwere ike ikwu maka *Mmụọ ya*. Ọ bụrụ na Chineke na-ekwo ekworo, mmụọ ya na-ekwokwa ekworo, Jemes na-ekwusi ike na Mmụọ Chineke nke bi n'ime anyị "**Àgu ayi nāgusi Mọ ahu ike n'uzọ ekworo**" maka mmetụta nke ndị na-agụ akwụkwọ ya. N'ihi ya, ọ na-enwe nwute site na nchụso ha *nke ịbụ enyi ụwa.* Ndi na-agu akwụkwọ ya ka Jemes chere na ha kwesiri i were ihe a dika ihe di ezigbo mkpa; N'ihi na akwụkwọ nso anaghi ekwu udi ihe a n'efu (n'uzo di mfe). N'eziokwu, okwu ndịa bụ *n'efu* bụ

nke ejikọtara site mmetuta siri ike banyere mmụọ Chineke, na-ekwuputa udi ahụhụ ha nwere ike inweta ma ọ bụrụ na eleghara ọchịchọ Mmụọ ahụ anya.

2. A na-agwota iwe site ịdị umeala n'obi (4:6-5;6)

**4:6.** Ọ bu ezie na Jemes ekwuputala ụdị ahuhu ndi na-agu akwukwo ya ga-enweta maka agwa ọjọọ ha (lee amaokwu 5) Ọ kpebiri ịghara itinyekwu uche na akụkụ a. Kama nke ahụ, o kwusiri ike na Chineke ahụ bụ onye ha kpaliri ekworo ya site n'ochicho nke *ịbụ enyi nke uwa*, n'agbanyeghị nke ahụ, nwere ọchịchọ siri ike ịbụ onye na-eme amara. **Ọ nēnye kari amara** kwupụtara nke a n'uzo dị oke mkpa. Amara Chineke anaghi agwụ agwụ - ike anaghi agwu Chineke inye amara ya. O nwere amara juru eju ọ ga-enye. Nke a bụ n'ezie mmechi dabara adaba maka ode akwụkwọ bụ onye ya na onye nwe anyi birila n'otu ebe (Jon 1:14)

N'ihi na amara Chineke anaghị agwụ agwu, James na-akpọ ndị na-agụ ya ka ha kwadebe onwe ha iji nata ya. N'ime nke a, ọ kpọtụrụ uche n'ilu 3:34 dịka ọ dị na Baịbụl Grik Agba Ochie (Septuagint).  O bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ ya anọgide na-egosiputa agwa **"mpako"**, Chineke *ga-eguzogide* ha. Ozokwa, nkwupụta nke nsogbu pụtara ìhè ebe a. Ma isi ihe bụ na ***"Chineke na-enye amara nye ndị dị umeala n'obi."*** Ihuọma si n'elu (amara) Ya bụ, ndị na-agụ ya ga-enweta amara Chineke ma ọ bụrụ na ha dị umeala n'obi. Nsogbu na esemokwu dị n'ime nzụko di iche iche  (Jemes 4:1-3) bụ ngosipụta pụtara ìhè nke mpako. Ọ dị mkpa ka e wepụ mmụọ a kpam kpam.

**4:7** Ihe na-esochi echiche nke a bụ òkù doro anya a kpọrọ ha icheghar̄ị. Ndị na-agụ ya kwesịrị ibu ụzọ doo onwe ha n'okpuru **Chineke**, ya bụ, kpebisie ike ime ihe ziri ezi na ihe na-atọ Ya ụtọ. Setan ga-anwale mkpebi siri ike dị otú ahụ. N'ụzọ dị otú a, ha kwesịkwara i**guzogidenu ekwesu** (dị ka Jisọs mere n'ọnwụnwa Ya) ma nwee olileanya inwe mmeri n'ebe onye iro a nọ: **ọ gāḅapu kwa n'ebe unu nọ**. Ọ bụ ezie na Setan nwere ikike dị ukwuu nke iduhie ndị mmadụ, a pụghị imeri ya. Onye Kraịst nke ji obi ya dum rara onwe ya nye Chineke na ikike nke Okwu Ya pụrụ ịdabere n'enyemaka nke Mmụọ Nsọ nke bi n'ime ya ma na-atụ anya na Setan ga-akwụsị mwakpo ya ma *gbapụ* mgbe ọ zutere ụdị nguzogide a.

**4:8**. Ma o zughị ezu nanị mmadụ ikwughachi nkwa nrubeisi na ime ihe na iguzogide ọnwụnwa. Nchegharị kwesịrị ịgụnye ihe metụtara onye ahụ n'onwe ya bụ́ nke ga-eme ka onye Kraịst na Chineke dịghachi ná mma. N'ihi ya, James na-agba ndi na-agu akwụkwọ ya ume ka ha **biarunu Chineke nso**, Ịmara na omume dị otu a ga-enweta nzaghachi n'aka Chineke: **Ọ gābiaru kwa unu nso.** N'ezie, dịka Onyeozi Jọn mere ka o doo anya (1 Jọn 1:9). Ma ekpere na itụgharị uche n'Akwụkwọ Nsọ bụkwa ụzọ dị mma. Ọ bụghị nanị na Chineke ga-agbaghara ha mmehie ha kamakwa ọ ga-enye ha ihe àmà ndị ọzọ na-egosi na ọ nọ ha nso. Ọ na-achọsi ike mgbe nile ime ka ndị kwere ekwe na Ya dị ná mma karịa ka ha dị. N'ihi ya, ịdị n'otu e weghachiri eweghachi n'etiti Chineke na ndị na-agụ akwụkwọ Jemes bụ kpọmkwem ihe Jemes bu n'uche n'ebe a. Chineke ga-agafe etiti ụzọ iji zute ha.

N'agbanyeghị na oku Chineke kpọrọ *ka a bịa Ya nso* juru n'amara, ọ gaghị ekwe omume ime ya ma a hapụghị mmehie n'eziokwu na n'obi mgbu. Ọtụtụ mgbe, ọbụna ndị Kraịst siri ike, mgbe ha bịara n'ihu Onyenwe ha, ha na-amata oke njọ ha n'ụzọ na-egbu mgbu (lee Aịsaịa 6:1–5; Mkpughe 1:17). Ọ ga-abụ ihe siri ike ka ndi na-agụ akwụkwọ Jemes itụ anya *ibiaru* Chineke *nso* n'uzo dị mma ma ghara inwe otu ụdị mmetuta ahụ n'ihi ya. A na-agba ha ume ka ha me ka **aka** [ha] di **ọcha** site na **nmehie** nakwa ime ka **obi** [ha] di **ọcha** site n'inwe echiche nke ***obi abụọ***. Ha ga-ewepụrịrị aka n'ihe ọjọọ ọ bụla ha tinyere aka na ya. Ọzọkwa, Ha ga ekwuputaririri na ha ga-ekewapụ onwe ha na nkwado nke ótú di iche iche ha nwere, bu nke mere ka ha na enwe ọchicho nke ụwa.

**4:9**. Ọ bụrụ na e mere nke a n'uche amamihe na n'okwukwe siri ike, ọ ga-abụ ihe dị otú o kwesịrị ka ha **hujunu anya, ru-kwa-nu újú, kwa-kwa-nu ákwá**: Ọṅụ ọ bụla ha na-enwe kwesịrị ịghọ ***iru-újú***, na ọṅụ ọ bụla ha na-enweta kwesịrị ịgbanwe bụrụ **nchegbu na mwute**. Nke a apụtaghị, n'ezie, na **ọchị** na **ọṅù** bụ ihe ọjọọ. ha abụọ bara uru n'ndụ mmadụ (lee, dịka ọmụmaatụ, Abụ Ọma 126:2; Ilu 17:22). Otú ọ dị, mgbe mmadụ na-eme mmehie n'onwe ya n'ihu Chineke, ịchị ọchị na ịṅụrị ọṅụ. Obi ụtọ n'oge dị otu a na-egosi na o jighị nchegharị ya kpọrọ ihe. Mgbe mmadụ n'ime obi ya ghọtara omimi nke ajọ omume ya n'ihu Chineke, mmeghachi omume a na-atụ anya ebe a agaghị adị ka ihe a na-emefu ike ime, kama ọ ga-apụta nke ọma dịka ihe sitere n'ime obi."

mmehie ndi nke na-agu akwukwo ya kwesiri ichegari na ya (4:1-3) bu nke putara

ìhè n'uzo zuru ezu n'ihe James deputara n'amaokwu a. Dikwa ka ọ di na cheghari ụmụnna niile, ihe bụ isi bu ikwusi agwa obi ojọọ ha. Nchegharị nke dị n'ọnụ naanị ma ọ bụ nke na-adịghị ebi n'ime obi na-eme ka mmadụ nwee ike ime mmehie ahụ ọzọ ngwa ngwa

**4:10.** N'ihi ya, nzube ha bụ iweda onwe ha ala n'ezie **n'iru Onye-nwe-ayi.** Ọ bụrụ na ha emee nke a n'ụzọ kwesịrị ekwesị, Chineke ***ga-ebuli*** [ha] ***elu*** otu ụbọchị. Ngwaa Grik a sụgharịrị *bulie elu* bụ hypsōsei, ọ na-eziputa "ịdị elu". Ọ bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ a ga eweda onwe ha ala ugbu a site n'ichegharị, Chineke ga-eme ka ha "dị elu" otu ụbọchị. Ma nke a ò mere ná ndụ a ma ọ bụ na o meghị, n'ezie Chineke ga-eji "ịdị elu" kwụghachi ha ụgwọ n'oge na n'ụzọ nke Ya.

**4:11.** Karịsịa, ha ekwesịghị ***ikwu okwu ọjọọ banyere ibe ha***. N'ọgbakọ ndị nwere nsogbu ndị ahụ Jems lekwasịrị anya na ha (4:1-3), a pụghị ịkwụsị esemokwu ọ gwụla ma a kwụsịrị ikwu okwu nkatọ na nke ikpe ọmụma banyere ndị ọzọ. Ngwaa ahụ a sụgharịrị bụ ikwu okwu ọjọọ (katalaleite) na-agụnye ụdị okwu ọ bụla na-adịghị mma nke na-emerụ ọdịmma kasịnụ nke nwanna nwoke ma ọ bụ nwanna nwanyị bú Onye Kraịst, n'agbanyeghị ma ihe a na-ekwu banyere ya ọ̀ bụ eziokwu ma ọ bụ ụgha.

N'ezie, okwu dị otú ahụ bụkwa ikpe na-ezighị ezi e kpere banyere àgwà ma ọ bụ omume nke Onye Kraịst ibe ya. N'ihi ya, Jemes na-adọ aka ná ntị na onye **nēkwutọ nwa-nna-ya, ma-ọbu nēkpe nwa-nna-ya ikpe** n'otu oge bu onye **nēkwutọ iwu, nēkpe kwa iwu ikpé**. N'ebe a, Jemes nwere ike na-eche echiche ọzọ banyere iwu eze nke Akwụkwọ Nsọ (lee 2:8) nke, na Lev 19:16-18, bu ụzọ dọọ aka ná ntị "ịghara ịgagharị dị ka onye na-agba asịrị n'etiti ndị gị" (v 16). Ndị na-agwa ndị ọzọ banyere mmejọ na adịghị ike nke Onye Kraịst ibe ha na-emebi iwu ahụ e nyere bụ́ 'ịhụ onye agbata obi gị n'anya dị ka onwe gị' n'ụzọ doro anya. Ma site n'ileghara iwu a anya site n'ịkatọ ndị ọzọ, ha na-akatọ ma na ekwupụta ikpe megide Iwu Eze n'onwe ya. Ebe ọ bụ na iwu a machibidoro ụdị okwu ahụ nile, onye na-emegide Iwu a na-egosi na n'ezie, sị: "Iwu a ekwesịghị ka m soro ya, m na-ekpe ya ikpe na ọ dịghịzi irè n'ihe a metụtara m." Ihe ịrụ ụka adịghị ya na echiche a pụrụ iju ndị na-agụ akwụkwọ Jemes

anya, ma n'agbanyeghị nke ahụ, ọ bụ eziokwu banyere mmebi iwu ọ bụla. Onye ahu na-emebi iwu na-ekpe iwu ahụ ikpe n’ihi na ọ jụrụ iso ya.

Omume dị otú ahụ abụghị ịdị umeala n'obi (lee amaokwu 10). Onye ọ bụla na-anọ n’ọnọdụ nke na-egosi na ọ na-ekpe iwu Chineke ikpe,, na-eme onwe ya ka ọ dị elu karịa iwu ahụ. Ma n'ọnọdụ ahụ, Jemes na-ekwu **i bughi onye nēdebe iwu, kama i bu onye-ikpé-ya.** Nke ahụ bụ, onye dị otú ahụ ahapụwo ọrụ ya kwesịrị ekwesị nke iji obi umeala na-edo onwe ya n'okpuru iwu ma ọ buliri onwe ya elu ruo n'ọkwá nke ịbụ onyeikpe. Mpako nke a, n'agbanyeghị na e mere ya n'amaghị ama, doro anya.

**4:12**. Ma ọ dịghị mmadụ nkịtị pụrụ ịrụ ọrụ dị otú ahụ, ebe ọ bụ na e nwere **nání otù Onye bu onye nēnye iwu** . Ọ bụ naanị Chineke **puru izọputa na ila ihe n'iyì:**, ya bụ, ime ka mmadụ dị ndụ ma ọ bụ iwepụ ndụ. Ngwaa e ji mee ihe n'ebe a (*sōsai na apolesai*) a na-ejikarị ha e mee ihe n'asụsụ Grik oge ochie mgbe a na-ekwu banyere ndụ anụ ahụ ma ọ bụ ọnwụ anụ ahụ. Enweghị ihe mere anyị ji kwuo na okwu a gbasara nzọpụta ebighi ebi n’ebe a N'ezie, Chineke bụ naanị onye na-ekpebi ọdịnihu ebighi ebi nke mmadụ, ma ekpebiela nke ahụ: ndị kwere ekwe enwerela onwe ha na ikpe ikpeazụ na nbibị." (Jọn 3:18; 5:24). Ma n’ebe a, ọ dị mfe nghọta na okwu a na-ekwu maka ndụ ma ọ bụ ọnwụ anụ ahụ, karịa ka ọ na-arụtụ aka n’eziokwu banyere nzọpụta ebighi ebi. (dịkwa ka ọ dị na Jemes 1:21; 2:14; 5:15, 20). Echiche ga-abụ mgbe ahụ na ọ bụ ezie na Onye Kraịst nwere ike ịma onye kwere ekwe ibe ya ikpe n'okwu ọnụ, ọ bụ naanị Chineke na-ekpebi ma ọ ga-azọpụta ha na ntaramahụhụ ọnwụ (1:15; 5:20) ma ọ bụ ma ọ ga-ebibi ndụ ha dị ka ntaramahụhụ (lee Ọrụ 5:1-11; 1 Ndị Kọrịnt 11:30).

Ya mere, isi ihe Jems na-ekwu doro anya: **ma gì onwe-gi bu onye, gi onye nēkpe onye-aḅata-obi-gi ikpé?** Ọ bụrụ na nchegharị ndị na-agụ akwụkwọ (Jemes 4:7-10) ga-abụ nke ezigbo ya, ha aghaghị ịdị umeala n'obi ruo n'ókè nke ịghọta na ha erughị eru ikpe Onye Kraịst ibe ha ikpe. Ihe ọ bụla ọzọ bụ nanị mkpụrụ nke mpako onwe onye.

**4:13-14.** N'ụzọ na-adọrọ mmasị, Jemes ji okwu nkenke katọọ ndị na-etu ọnụ banyere atụmatụ azụmahịa ha n'eleghara ịdị mkpụmkpụ nke ndụ ha anya. NKJV nkebi

ahịrịokwu **"Ta ma-ọbu echi"** na-agụ site n'ọtụtụ ihe odide Grik nke Jemes dị ka *taa na echi*, nke a ka mma. Ndị a na-etu ọnụ nwere obi ike zuru ezu n'ime atụmatụ ha ga-eme n'ọdịnihu. Ha ekpebiela ịga n'otu obodo pụrụ iche ("***obodo a ma ọ bụ nke ọzọ"***) ma njem ha ga-ewe ha ụbọchị abụọ (*taa na echi*). Ha tụrụ atụmatụ ịnọ ***"otu afọ"*** rụọ ọrụ azụmahịa n'ebe ahụ, hụkwa ka ha ga-esi "**rita kwa urù**." Ma, dị ka Jemes siri kwuo, ha ***amaghị ihe ga-eme echi*** (lee Ilu 27:1). Ha etinyela atụmatụ otu afọ dum, n'enweghị ihe ha mara banyere ihe echi ga-eweta. Ihe ọ bụla nwere ike ime echi iji mebie ebumnobi ha. Ha pụrụ ọbụna ịbụ ndị na-agaghị adị ndụ echi, ebe ọ bụ na ndụ ha abụghị ihe ọzọ karịa **alulu, nke nāputa ìhè nwa oge, emesia ọ we pua n'anya**

**4:15**. Kama ịna-enwe ntụkwasị obi na mpako banyere atụmatụ ha, ọ kwesịrị ka ha mata na Chineke na-achịkwa azụmahịa ha nakwa ọbụna ndụ ha. **Ma nke kwesiri unu ka *ha* kwue bu,** ma ọ bụrụ na ha dị umeala n'obi n'ezie, bụ na ndụ ha (**ayi gādi ndu**,) na ihe ha na-eme ("**me kwa ihe a ma-ọbu ihe ahu**") dabere n'uche Chineke. Okwu ahụ bụ́ "**Asi na Onye-nwe-ayi chọrọ**" gaara-abụ ihe kacha dị mma n'egbugbere ọnụ ha, ọ bụghị dị ka okwu nkịtị, kama dị ka ezi ngosipụta nke ndabere ha n'ebe Chineke nọ.

**4:16**. Ma kama ịdị umeala n'obi a, ndị na-agụ ya na **ānya isi** n'ezie **n'oké okwu** [ha]. Otú ọ dị, okwu a edoghị anya n'ụzọ zuru ezu dị ka e si sụgharịa ya na NKJV. Okwu *Grik kauchasthe en tais alazoneiais hymōn* bụ n'ezie nke KJV ji mee ihe nke ọma dị ka "ị na-aṅụrị ọṅụ na ịnya isi gị." Ikekwe ọ pụkwara ịpụta, "Ị na-anya isi n'ihe ndị ị na-eme iji gosi na ị dị mpako". Isi okwu James bụ na okwu ntụkwasị obi n'onwe ha ọ kpọrọ asị (n'ime amaokwu 13–14) karịrị naanị ịbụ ndakpọ olileanya n'icheta ọchịchị zuru oke nke Chineke. Kama nke ahụ, atụmatụ na-ezighi ezi dị otú ahụ bụ isi iyi mpako nye ndị na-ekwupụta ha. Nke ahụ bụ, ha na-enwe mmasị igosipụta "nkwupụta ndị a" (*alazoneiais*) iji dọta mmasị ndị ọzọ. Ọ bụrụ na e lee ya anya n'ụzọ dị otú ahụ, **inya-isi nile di otú a bu ajọ ihe.**

Ọ na-eme ọtụtụ oge n'ime chọọchị na ndị mmadụ na-enwe mmasị ime ka ndị ọzọ mara atụmatụ ha (banyere azụmahịa ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ) iji mee ka ha kwanyere ha ùgwù, nwee mmasị n'ebe ha nọ, ma ịsọpụrụ ha. Ọbụna onye ozi ala ọzọ (missionary) ma ọ bụ onye nkwusa ozioma pụrụ ịdaba n'ọnyà nke ikwupụta atụmatụ

ya ijere Chineke ozi dị ka ụzọ isi nweta nsọpụrụ n'aka ndị Kraịst ibe ya. Okwu Jemes kwuru n'ebe a na-echetara anyị mgbe nile *na mpako nile dị otú a bu njọ*.

**4:17**. Ya mere, ọ bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ Jemes maara ihe kwesịrị ime ma kwuo, ha kwesịrị ime ya. N'ihi na ọ bụrụ na ha emeghị ya, ọdịda ha n'onwe ya bụ mmehie. Ọ bụrụ na ha maara na ha kwesịrị ikweta na ha dabeere n'uche Chineke mgbe ha na-ekwu banyere atụmatụ ha, ha kwesịrị ịmalite ozugbo ime ihe kwekọrọ n'ihe ọmụma ahụ, ebe ọ bụ na **onye matara ime ihe ọma, ma ọ meghi ya, ọ buru onye ahu nmehie**. Mmehie apụghị ịbụ naanị ime ihe ọjọọ, kama ọ nwekwara ike ịbụ omume ziri ezi nke a na-emebeghị eme. Ya mere, ndị kwere ekwe ekwesịghị ịhapụ ikwu n'okwu ha na ndụ ha na ihe ha na-eme dị mfe dị ka anwụrụ ọkụ na-apụ n'anya. Ha kwesịrị ikweta na Chineke bụ naanị onye nwere ike inye ha ike ime ihe ha na-atụ anya ime, ma ọ bụ atụmatụ ha chọrọ ime.

**5:1**. N'ihi ihe James kwuru banyere ịchọ akụ̀ ụwa na inye mmadụ otito dabere na ọnọdụ ha, ọ na-enye ugbu a otu ncheta siri ike na nke doro anya na akụ̀naụba nile nke ụmụ mmadụ na-adịru nwa oge. Iji chetara ha nke a, ọ na-eyiri uwe onye amụma ma na-ekwu okwu n'ụzọ na-echetara ha amụma dị n'Agba Ochie. (Lee Joel 1:5, 13; Aịza 13:6; 14:31; 15:3; Jeremaịa 4:8, bụ́ ebe okwu Jemes ji mee ihe maka iti mkpu [*ololyzontes*] pụtara na LXX, bụ́ nsụgharị Grik nke akụkụ Akwụkwọ Nsọ ndị a.) O doro anya na ọ bụghịzi nanị ndị Kraịst ka ọ na-agwa okwu, ọ bụ ezie na ọ bụ ha ka e bu n'obi dee akwụkwọ ozi ahụ. N'agbanyeghị nke ahụ, a haziri okwu ya iji kpọtee ndị na-agụ ya site n'ikwusa n'ụzọ doro anya banyere mbibi a ga-ebibi akụ̀naụba nile nke ihe a kpọrọ mmadụ n'oge ikpeazụ.

Mgbe ahụ, n'ilepụ anya n'ụwa, Jems ji okwu yiri nke onye amụma na-ikwusa nhụsianya nke ndị ọgaranya, bụ́ nke kwesịrị ime ka ha kwaa ákwá ma kwaa ákwá arịrị.

**5:2-3**. A na-elezi iru újú nke kwesịrị ndị ọgaranya anya ugbu a dị ka mbibi nke akụ̀naụba nile nke ihe a kpọrọ mmadụ. Dị ka ọ na-adịkarị n'amụma ndị e buru, e kwuru banyere ikpe a ga-ekpe n'ọdịnihu dị ka ihe emezuworo emezu (nke e mewororị emezu), Jemes hụkwara **àkù*naụba*** ụmụ mmadụ dị ka ihe ***rere ụre***, **uwe** ndị dị oké ọnụ ahịa dị ka ihe **nla ripiaworo**, **Ọla-edo na ọla-ọcha** nke ụwa **aḅawo nchara**. Ma mgbe ahụ, ọ na-agbakwụnye n'ụzọ dị ịtụnanya, **nchara-ha**... **ọ gēripia**

**kwa anu-aru-unu dika ọku**. Ọ bụ ezie na Jemes nwere ike na-arụtụ aka na ikpe ikpe nke akụnaụba mmadụ na njedebe nke Mkpagbu (tulee.zekaraya 14:12-15), ọ chọrọ ka ụmụnna ndị ahụ bara ọgaranya mata ma hà ga-ahụ ụbọchị ikpeazụ ma ọ bụ na ha agaghị ahụ, akụnaụba ha nile ga-ere ọkụ. N'ihi ya, ha ekwesịghị ịhụ ihe onwunwe n'anya ma ọ bụ inwe anyaukwu, ha aghaghị izere ile mmadụ anya n'ihu.". Nchịkọta nke akụnaụba na-abaghị uru ga-eguzosi ike dị ka ihe àmà ndị ọgaranya nke ụwa ebe ọ bụ na ha bụ ndị nzuzu **kpadoro àkù na mḅe ikpe-azu**

**5:4.** N'ezie, ikpe ziri ezi ga-abịakwasị ndị ọgaranya nke ụwa a na-enweghị ezi omume. N'akukọ ihe mere eme nile, ọ bụghịkwa nanị n'oge Jemes, ndị ọgaranya abụwo ndị ikpe mara n'ịghara ịkwụ **ugwọ-ọlu nke ndi-ọlu ndi bìri ọka n'ubi**. Nke a apụtaghị na ha akwụghị ha ụgwọ, kama na ha ji aghụghọ kwụọ ha ụgwọ na-erughị ihe ha kwesịrị. N'ebe a, Jemes ji ụgwọ ọru ndị a mee ihe dị ka ndị na-ebo ndị ọgaranya ebubo bụ́ ndị ***na-etiku*** Chineke maka ịbọ ọbọ. Ọzọkwa, a na-anu mkpu ákwá ndị a (ọ ga-abọkwa ọbọ) site n'aka **Onyenwe anyị nke Sabaoth**, ya bụ, site n'aka **Onye-nwe usu nile nke ndi-agha**. (Ndị agha). N'ebe a kwa, o yiri ka ebe a na arụtụ aka n'Ọbịbịa nke Abụọ ahụ n'ụzọ doro anya, ebe ọ bụ na Jisọs ga-alọghachi iji mezuo ikpe, na-agba ịnyịnya n'isi usuu ndị agha nke eluigwe (Mkpu 19:14).

**5:5-6**. N'oge ochie, o doro anya na ọ bụ omenala ndị ọgaranya ime oriri mgbe ha na-akpacha ajị atụrụ ha ma gbuo ụfọdụ n'ime ha iji nweta anụ maka tebụl ha ji eme ememme (lee 1 Sam 25:4-8; tulee. (Ọma 44:22; Jere. 12:3) Jemes kwuru na ọ bụ otú ahụ ka ndị ọgaranya si akpa àgwà. Ha **biri n'oké oriri na ọṅuṅu** n'elu uwa, di kwa ndu ọjọ dika ọ nātọ aru-unu utọ; **unu zùru obi-unu n'ubọchi oḅuḅu**. Ihe atụ ahụ doro anya. A kọwara ndị ọgaranya dị ka ndị nọ n'oriri na-adịghị akwụsị akwụsị, na-eme ka obi ha jupụta n'ihe ụtọ na ihe ndi na adi ha mma ndị ha nwere n'ụba. (Tụlee nwoke ahụ bara ọgaranya nke Luk 16:19, bụ́ onye 'na-eri oké ihe kwa ụbọchị.') Otú ọ dị, n'ụzọ dị mwute, ọ bụghị nanị n'igbu atụrụ ka ha na-egbu na *ụbọchị igbu anụ.* Ha nwekwara ndị ọzọ ha gburu: **Unu mara ikpé, unu ḅuru onye ezi omume ahu; ọ dighi-edo onwe-ya imegide unu.**

N'ihi ya, aka ndị ọgaranya juru n'ihe aghụghọ (Jemes 5:4) na igbu mmadụ (amaokwu 6). Ndị ezi omume, ndị na-emegideghị ikpe na-ezighị ezi, anwụọla n'ime mkpagbu nke ndị ọgaranya kpalitere (lee 2:6-7). Mmehie nke ndị ọgaranya dị nnọọ ukwuu.

N'ụzọ na-akpali mmasị, okwu amụma Jemes kwụsịrị na mberede n'okwu nkatọ a. Otú ọ dị, mmetụta nke nkwubi okwu mberede a dị irè. Ọ dị ka à ga-asị na Jemes na-akọwapụta n'igbu ndị ezi omume dị ka ebubo ikpeazụ na nke kasị elu a ga-ebo ndị ọgaranya, bụ́ nke na-eme ka ihe nile o buru n'amụma banyere ha bụrụ ihe ọdachi ga-emesị dakwasị ha. A na-atụ anya na mgbe ntụgharị uche siri ike a banyere akụ mmadụ na ndị bara ụba gasịrị, ndị na-agụ akwụkwọ James ga-amalite ile akụ̀nụba ụwa anya n'ụzọ dị ala.

V. Okwu Mmechi: Ịtachi Obi n'Ule Ruo Ọgwụgwụ (5:7-20)

A. Ntachi obi nwere ezi ugwo orụ (5:7-11)

Jemes 5:7 — Amụma Jemes (5:1-6), n'agbanyeghị na ọ bụ akụkụ nke akwụkwọ ozi ya, na-etinye ntọala maka mmechi okwu ya. A pụrụ iji amụma mee ihe ọ bụghị nanị iji mee ka ndị na-agụ ya kwụsị inwe akụ̀naụba nke ụwa, kamakwa iji gbaa ha ume ịtachi obi ruo ọgwụgwụ,

n'agbanyeghị ọnwụnwa ha na-eche ihu ugbu a. N'ihi ya, ha kwesịrị inwe **ogologo-ntachi-obi rue ọbibia nke Onye-nwe-ayi**. Nsogbu nwere ike ime ka mmadụ na-atụ anya nlọghachi Kraịst, ma ọ bụrụ na ndị kwere ekwe na-ele nlọghachi Ya anya naanị n'ihe gbasara ọnọdụ ha na-achọsi ike, a ga-anwa ha ịbụ ndị enweghị ndidi kama inwe ndidi.

N'etiti ndị ọrụ ugbo nọ na Palestaịn n'oge Jemes, a maara ***mmiri ozuzo mbụ na nke ikpeazụ*** nke ọma (ya bụ, mgbe a kụsịrị mkpụrụ: ná ngwụsị oge mgbụsị akwụkwọ; tupu owuwe ihe ubi: ná mmalite oge opupu ihe ubi).

N'ihi ya, **onye-ọlu-ubi** ahụ ji ndidi chere ka mmiri ozuzo nke dị oké mkpa maka imepụta **nkpuru di oké ọnu-ahia nke ala** nwere ike bụrụ ihe atụ nke ndidi n'anya ndị na-agụ akwụkwọ Jemes bụ́ ndị Palestine. Mana ebe ọ bụ na ihe oyiyi owuwe ihe ubi gbanyere mgbọrọgwụ n'amụma ngwụsị oge na Agba Ọhụrụ (dịka n'ihe dị na Matiu 13:39), o nwere ike ịbụ na ebe a na-arụtụ aka n'ebe Onyenwe anyị nọ dị ka onye ọrụ ubi nke nke ji ndidi na-echere mmezu nke ihe niile.

**5:8**. N'ọnọdụ ọ bụla, ma mmadụ ọ̀ na-eche banyere onye ọrụ ugbo bụ́ mmadụ ma ọ bụ Chineke, Ndị na-agụ akwụkwọ James nwere ike ịchọta ntọala dị mma iji

nwe **ogologo-ntachi-obi;** ma mekwa **ka obi-**ha **guzosie ike: n'ihi na ọbibia nke Onye-nwe-ayi di nso.** N'ịkwado eziokwu a, e nwere ndị chere na James (dịka ndị ọzọ dere Akwụkwọ Nsọ Ọhụrụ) hiere ụzọ. A na-ajụ, sị, *Olee otú ọ ga-esi bụrụ na ọbịbịa nke Onyenwe anyị dị nso* n'oge Jemes, mgbe ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ puku afọ abụọ gafere n'eweghi mmezu? (N'ezie, ajụjụ a enwerela azịza site n'aka Pita n'akwụkwọ 2 Pita 3:3–9) E nwere ọtụtụ azịza nye mmegide a nke na-esite na ekweghị ekwe, mana nke kachasị dabara adaba na nke a bụ nke a: ọbịbịa nke Onyenwe anyị *dị nso mgbe niile* (*ēngike*, "abịaruwo nso") kpọmkwem n'ihi na ndị kwere ekwe enweghị ihe ọ bụla a maara nke ga-ebu ụzọ mee tupu ọ bịa (lee amaokwu na-esote). N'ime ihe karịrị narị afọ iri abụọ, ọ na-enwe àgwà a mgbe niile nke na onye kwere ekwe nwere ike ịsị, "ọ ka na-enwekarị ụdị àgwà a, nke na onye kwere ekwe nwere ike ikwu n'ime eziokwu, sị: "Ọ nwere ike ịbụ taa." Ihe ọ bụla *kwesiri ime*, ma *nwekwara ike ime* taa, dị n'ezie nso. N'ihi ya, ndị na-agụ ya nwere ike iji nghọta a mee ka obi ha zuo ike ma nọgide na-atachi obi, ha nwere ike ime ka *obi* ha *guzosie ike*.

**5:9**. Ọ bụrụ n'ezie na obi ha na-eguzosi ike n'olileanya a, ndị na-agụ ya agaghị ***atamurita megide ibe ha***. Okwu ahụ bụ ntamu na-asụgharị okwu (*stenazete*) nke pụtara "ịsụ ude" ma ọ bụ "ịma ọsụ". N'ihi *agha na ịlụ ọgụ* ndị Jems dọrọ aka ná ntị na ha na mbụ (4:1-3), ngwaa a na-ada ka nke dị nwayọọ ma e jiri ya tụnyere ya. Jemes ji obi ebere were na a ga-aṅa ntị n'ọkpụkpọ òkù ya maka nchegharị (4:7-12), nakwa na chọọchị dị iche iche ga-enwe nkwekọ na udo ka ukwuu n'ime. Otú ọ dị, iji ezi uche eme ihe chọrọ ka ọ dọọ aka ná ntị megide ọbụna mkpesa ndị Kraịst na-emekarị megide ibe ha. Ọ bụrụgodị na ọ bụ nanị "ịsụ ude" ma ọ bụ "ịma ọsụ", ha kwesịrị izere ya, ebe ọ bụ na ọbịbịa nke Onyenwe anyị pụrụ ime n'oge ọ bụla.

A na-egosipụta echiche a nke ịdị nso nke nlọghachi Onye Nzọpụta ahụ n'ihe atụ ahụ na-akpali akpali bụ́, **le**, **Onye-ikpé-ayi nēguzo n'iru ọnu-uzọ**! N'ụzọ dị otú a, e ji ndị na-agụ akwụkwọ ahụ tụnyere ìgwè ndị nọ n'ụlọikpe. A na-achọ ịgbachi nkịtị n'ihi nkwanye ùgwù maka onye ọka ikpe, onye dị n'èzí ọnụ ụlọ ikpe na-atụ anya ịbanye iji nọdụ n'oche ikpe." A chọọ ka ebe ọ bụla daa jụụ n'ihi nkwanye ùgwù maka Onye Ọkaikpe ahụ, nke nọ nnọọ n'èzí ọnụ ụzọ ụlọikpe ahụ ma na-achọ ịbanye n'ime ụlọ ikpe ahụ iji were ọnọdụ ya n'oche ikpe. Dị ka onye agha Rom oge ochie nke na-elekọta ma na-echebe ndị ọkàikpe, o na kwupụta na otu ọkàikpe na-aga ịbata, dị ka a pụrụ isi kwuo ya, Jemes tiri mkpu, sị: "Nọrọ jụụ!" Ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ ya

aghaghị imechi mkpesa ha na-eme megide ibe ha n'ịghọta na Onyenwe ha na Onyeikpe ha nwere ike ịpụta n'oge ọ bụla ma nọdụ ala na Bēma (oche ikpe) iji nyochaa ndụ ha (lee 2:12-13; lee kwa Rom 14:10-12; 2 Ndị Kọrint 5:10). N'ihi ya, ha aghaghị ịkpachara anya ka Ọ ghara ịhụ ha ka ha na-azụlite mmụọ ịtamu ntamu megide ndị kwere ekwe ibe ha (lee 2 Pita 3:12). Ndị Rom 14:12-13a).

**5:10**. Ọ̀ dị ndị na-agụ akwụkwọ a mkpa inwe ihe ndị ọzọ mere ha ga-eji jiri ndidi chere ruo ọgwụgwụ? Ọ bụrụ otú ahụ, **natanu ndi-amuma ahu, bú ndi kwuru okwu n'aha Onye-nwe-ayi, dika ihe-ilere-anya.** Jemes na-eme mgbanwe dị nro site na ịdọ aka ná ntị nke dabeere n'*amụma* (Nweli ndi nso, v. 7-9) gaa na ịdọ aka ná ntị nke dabeere na ndi amụma n'onwe ha. Ndị ohu Onyenwe anyị dị ka Daniel na Jeremaịa, maara ihe banyere **ihuju-anya na ogologo-ntachi-obi**.

Okwu ahụ a sụgharịrị bụ *nhụjuanya* (*kakopatheias*) na-enye echiche nke ntachi obi n'okpuru ihe isi ike ma ọ bụ nhụjuanya. N'ihi ya, ọ dịtụ iche n'inwe *ndidi* (*makrothymias*), nke na-egosi ịchịkwa iwe mmadụ ma ọ bụ mmetụta uche ya, ya bụ, inwe ihe a na-akpọkarị "ogologo (*makro-*) ntachi obi." A gwara ndị na-agụ ya ka ha "nwee ndidi (*makrothumēsate*)...ruo ọbịbịa nke Onyenwe anyị" (v 7-8) na ịchịkwa iwe ha n'ebe ibe ha nọ (v 9). Ndị amụma oge ochie gosipụtara njide onwe onye a mgbe ha tachiri obi n'okpuru ọtụtụ ule siri ike.

**5:11**. Ma n'agbanyeghị ahụhụ ha na-ata, Jemes na-ekwu na ndị kwere ekwe na-eleghachi anya azụ n'ebe ndị amụma nọ ma na-enwe mmasị na nkwanye ùgwù n'ihi ntachi obi ha. N'ezie, ha na-ele ndị nile tachiri obi n'ọnwụnwa anya n'otu ụzọ ahụ: **ayi nākpọ ha ndi ngọzi diri, bú ndi tachiri obi**. Ndị na-agụ ya n'ezie, nwere ike ịsị ihe a gbasara Jọb — onye a ma ama n'Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie n'ihi **ntachi-obi** ya (*hypomonē*, "ntachi obi") n'okpuru ọnwụnwa. Ndị na-agụ akwụkwọ ahụ hụkwara (n'akụkọ Bible a maara nke ọma) ***njedebe nke*** **Onye-nwe-ayi zubere**. Ntụaka dị n'okwu ọgwụgwụ bụ nke doro anya na nkwubi okwu nke Akwụkwọ Job, ebe e kwuru na "Onyenwe anyị gọziri ụbọchị ikpeazụ nke Job karịa mmalite ya" (Job 42:12). Ebe ọ bụ na ihe Job nwere na ngwụsị ụbọchị ya karịrị nnọọ ihe o nwere na mmalite, ndị na-agụ ya pụrụ ihụ na **Onye-nwe-ayi bu onye nwere ọmiko ri nne, nwe kwa obi ebere..**

Ihe nke a pụtara, n'ezie, bụ na ndị na-agụ ya pụrụ ịtụ anya ịbụ ndị a ga-akwụghachi ụgwọ maka ihe ọ bụla ha diri (ma ọ bụ tụfuru) n'okpuru ule ndị Chineke zitere n'ụzọ ha, n'ezie, ọ bụrụ na ha mere onwe ha nke ọma dị ka Job na ndị amụma mere. Ma, ihe Jemes na-ekwu bụ na Chineke bụ Onye na-eme ebere na onye obi ebere nye ndị na-atachi obi nke ọma. Ndị na-agụ akwụkwọ agaghị enwe ihe ndabere ikwu na a ghaghị ịkwụghachi ha ụgwọ ọrụ ha n'ụzọ ihe onwunwe, dị ka Job. Kama nke ahụ, uru ime mmụọ nke ọnwụnwa yiri ka ọ ga-ebute ụzọ n'uche Jemes (tulee. 1:1-12). Otú ọ dị, n'ihe gbara ya gburugburu nke na-egosi n'ụzọ siri ike na ọbịbịa nke Onyeikpe ahụ (v 7-10), ọ bụ ihe dị mma iche na Jemes bu ụgwọ ọrụ ndị a ga-enye n'oche ikpe nke Kraịst n'uche (lee 1 Ndị Kọrint 3:14; 2 Ndị Kọrint 5:10). O zuru ezu ikwu na Jemes kwenyesiri ike na Onyenwe anyị nwere *ọmịiko na obi ebere* ga-akwụghachi nnọọ onye na-atachi obi n'ọnwụnwa ụgwọ ọrụ.

B. Ekpere Nwere Ike Ịkwado Ntachi Obi (5:12-20)

Jemes jikọtara Isiokwu nke 5:7-11 n'ụzọ siri ike n'ime òkù sara mbara, bụ́ nke a na-akpọ n'ozuzu ya iji ndidi na-atachi obi ruo mgbe Onyenwe anyị ga-alọghachi. Ugbu a, ná ngwụsị nke akwụkwọ ozi ya, Jems nyere ndụmọdụ ụfọdụ bara uru bụ́ ndị metụtara mkpa ọ dị ndị na-agụ ya ịtachi obi. Dị ka ọ dị n'ịdọ aka ná ntị atọ ahụ dị na 1:19, otú ahụ ka ọ dị n'ebe a.

**5:12**. Nke mbụ, ọ chọrọ ka ha zere ịṅụ iyi. N'elu **ihe nile** (*propantōn*) bụ iji mesie ya ike, ọ bụghị iji bulie iwu a elu karịa nke ọ bụla ọzọ. Ọ bụ kpọmkwem mgbe ndị mmadụ nọ n'oké nrụgide (ọnwụnwa) ka ha na-adị achọ iji okwu ndị na-ekwesịghị ekwesị eme ihe, dị ka ịṅụ iyi. Ịṅụ iyi iji gosi na mmadụ kwuru eziokwu mgbe ya na ndị ọzọ na-ekwurịta okwu na-egosi na okwu onye dị otu a ekwesighi ntụkwasi obi. Ya mere, ndị na-agụ akwụkwọ a kwesịrị izere ụdị ịṅụ iyi a. Ha ekwesighi ***ịṅụ iyi*, unu ejila elu-igwe, ma-ọbu ala, ma-ọbu ihe iṅu-iyi ọ bula ọzọ,**, dịka Onyenwe anyị n'onwe ya kuziri (Mat 5:34). Kama nke ahụ, ha kwesịrị ịbụ ndị na-emezu okwu ha, ndị nkwenye na ịgọnahụ ha dị mfe ma doo anya - **"Ee" na "Mba,"** na-achọghị nkwado ọzọ dị ka iyi nwere ike iyi ka ọ na-enye.

NKJV n'ebe a sụgharịrị ederede Grik nke pụtara ka **ị ghara idabà** (n'ezi., "**n'okpuru**") **ikpé** (hypo krisin). Ma o yikarịrị nnọọ ka ihe odide ochie ole na ole ndị nwere akụkụ ihe odide a hà na-egosipụta njehie nke onye odeakwụkwọ oge ochie bụ́

onye wepụrụ obere okwu Grik bụ́ eis ("n'ime"). Nke a ga-ahapụ naanị *hypokrisin* (ihu abụọ) nke ndị *editọ* kewara ugbu a n'ime *hypo krisin* ("n'okpuru ikpe"). Ọnụ ọgụgụ ka ukwuu nke ihe odide Grik nke Jemes na-agụnye *eis* nke mere na ihe odide ahụ kwesịrị ịgụ, "ka unu wee ghara ịdaba n'ihu abụọ" (*eis hypokrisin*).

Onye na-aṅụ iyi na-eji ihu abụọ eme ihe n'ụzọ dị mfe n'ihi na ọ na-enye ya ohere ịgha ụgha n'agbanyeghị na o ji ezi obi na-ekwu na ya na-ekwu eziokwu. Pita dabara nnọọ n'ụdị omume ihu abụọ a site n'ịgọnahụ Onyenwe anyị. Amamihe Jemes na-abịa na nke a: onye kwere ekwe ekwesịghị iji iyi mee ihe iji gosipụta na "oge a, m na-ekwu eziokwu!"Kama nke ahụ, ọ kwesiri ịna-ekwu eziokwu mgbe niile. N'ụzọ dị otú a, ọ pụrụ izere ọnyà nke ịṅụ iyi, bụ́ nke na-eme ka ọ dịrị ya mfe ịdaba ná nkwurịta okwu ihu abụọ

**5:13**. Ịdị jụụ na omume kwesịrị ekwesị, ọbụna n'okpuru nrụgide, bụ ihe Jemes na-achọ n'ezie n'ebe a. Ịṅụ iyi n'echeghị echiche bụ mmeghachi omume na-adịghị mma n'ọnọdụ ọ bụla. Ma ọ bụrụkwanụ na mmadụ **na- nāhuju anya** n'ezie? Ọ bụrụ otú ahụ, o kwesịrị ikpe ekpere. ọ bụrụkwanụ na mmadụ **nwere obi-utọ**? Ọ bụrụ otú ahụ, o kwesịịrị ịbu abụ ọma. Okwu a sụgharịrị **ya bùa abù ọma**. (*psalletō*) nwere ike inwe ihe ọ pụtara n'ozuzu ya, "ka ọ na-abụ abụ otuto," ọ bụ ezie na ọ ga-abụ na chọọchị mbụ, a na-ewu abụ ndị dị otú ahụ na abụ ọma nke Akwụkwọ Nsọ Agba Ochie.

**5:14-15**. N'usoro nkọwa zuru ezu karịa, ọ bụrụkwanụ na onye ahụ na- nāhuju anya (nke e kwuru okwu ya n'amaokwu nke 13) na-arịa ọrịa? Ekpere kwesịrị ekwesị n'ezie (amaokwu nke 13), ma n'ọnọdụ a, onye ahụ ***na-arịa ọrịa*** pụrụ inweta ụdị ekpere pụrụ iche. Onye ahụ na-arịa ọrịa pụrụ ***ịkpọ*** **ndi-okenye nke nzukọ Kraist**. Ndị ikom a ga-abịakwute ya ma, mgbe ha ***tesịrị ya mmanụ*** **n'aha Onyenwe anyị**, ***ha ga ekpee ekpere n'isi ya***. (A na-aghọta ụtọ asụsụ Grik n'ụzọ kasị pụta ìhè dị ka nke na-egosi na *ite mmanụ* ahụ bu ekpere ahụ ụzọ.) Ebe Chineke nyeere otu ma ọ bụ karịa n'ime ndị ikom a aka ikpe **ekpere nke okwukwe**, ekpere ahụ **gāzọputa kwa onye ahu *na-arịa ọrịa*** ịnwụ anwụ, **Onye-nwe-ayi gēme kwa ka o bilie**.

Ọ dịghị ihe ọ bụla e kwuru n'ebe a banyere onyinye nke ịgwọ ọrịa nke ọ bụla n'ime *ndị okenye ahụ* nwere. Kama nke ahụ, ndi-okenye nke nzukọ Kraist a na-arụ ọrụ dị ka ndị na-arịọchitere onye ahụ na-arịa ọrịa arịrịọ. Jemes ekwughịkwa na ana-agbake mgbe niile. Ọ pụrụ ịbụ na, n'ọnọdụ ọ bụla, ndị okenye ejighị n'aka ma mgbake ahụ ọ̀ ga-abụ nke kasị mma. Ka ndi-okenye nke nzukọ na-adabere na Baịbụl ma na-aghọtakwu ihe, otú ahụ ka ọ ga-adịrị ha mfe iji ihe ime mmụọ nyochaa ọnọdụ ahụ kpọmkwem ma kpee ekpere kwekọrọ na ya.

Ebe ọ bụ na a na-ete mmanụ a *n'aha Onyenwe anyị*, ọ dịkarịa ala, anyị pụrụ iwere ya dị ka ihe na-egosi ịdabere n'ikike Chineke nwere ịgwọ ọrịa. Ọ bụ nanị Eze Onyenwe anyị pụrụ ịkpọlite onye ahụ na-arịa ọrịa. Nke a kwekọrọ n'eziokwu ahụ bụ́ na ọtụtụ n'ime ite mmanụ ndị e kwuru okwu ha n'Agba Ochie na-arụtụ aka n'ikike Chineke nwere ịhọrọ mmadụ maka ọrụ ụfọdụ (ma ọ bụ onye amụma, onye nchụàjà, ma ọ bụ eze).

Otú ọ dị, ọ ga-ekwe omume na ite mmadụ mmanụ nke Jemes na-arụtụ aka na ya bụ usoro ọgwụgwọ a na-eme n'oge ahụ (lee Mak 6:13; Luk 10:34). Iji mmanụ ete mmadụ bụ ihe a na-eji agwọ ọrịa n'ụlọ. Ọ bụrụ na nke a bụ ihe Jemes na-arụtụ aka na ya, ndị okenye na-ekpe ekpere n'isi onye ahụ na-arịa ọrịa mgbe ha nyesịrị ya ọgwụ.

James na-akọwa na ọ bụrụ na mmadụ emee mmehie, a pụrụ ịgbaghara ya ma gwọọ ya. Ma ọ bụ kpọmkwem okwu ndị ahụ ma **ọ buru kwa na o mehieworo,** na-eme dị ka ịdọ aka ná ntị dị mkpa. Ọ bụghị ọrịa nile na-esi ná mmehie apụta (dị ka ụfọdụ ndị na-akụzi), ma ụfọdụ n'ime ha na-esi na ya apụta (tulee 1 Kọrịnt 11:30). Eziokwu ahụ bụ́ na onye na-akpọku ndi-okenye nke nzukọ na-egosi na ya dị njikere idozi mmehie ọ bụla zoro ezo bụ́ nke ọ pụrụ ịbụ na o mere. N'ụzọ doro anya, ndị okenye a kwesịrị ime nnyocha kwesịrị ekwesị banyere nke a, ọ gwụla ma ọnọdụ ahụ ò doro nnọọ anya nke na ime nnyocha adịghị mkpa. Nke a na-eme ka o dokwuo anya na ọ pụrụ ịbụ ihe amamihe na-adịghị na ya ndi-okenye nke nzukọ a ịmalite usoro ahụ Jemes na-akọwa. Ọ bụrụ na onye ahụ na-arịa ọrịa akpọghị ha, ọ pụrụ ịbụ n'ihi na o nwere mmehie ná ndụ ya nke ọ na-adịghị njikere ịnagide.

**5:16.** Kaosinadị, ndị nile na-agụ akwụkwọ James kwesịrị ịdị njikere maka nkwupụta mmehie ahụ n'ezoghị ọnụ na n'eziokwu nke bụ mmalite dị mkpa maka ọgwụgwọ (**ka ewe me ka aru di unu ike**). Ma iwu ahụ bụ́ **nēkwuputanu nmehie nile unu gwarita ibe-unu**, ka dabeere n'ihe Jems kwuru banyere ọrịa, e kwesịghịkwa ịtụle ya dị ka ịdọ aka ná ntị n'ozuzu ya. Ọ dịghị iwu dị na Baịbụl nke na-enye anyị iwu ikwupụta mmehie anyị nile n'ihu ọha. Ọ dị mkpa mmadụ ikwupụtara Chineke mmehie ọ bụla o mere, e kwesịkwara ime ya dị ka 1 Jọn 1:9 si kwuo. Ma ọ bụ nanị n'ebe a n'Akwụkwọ Nsọ ka e nwere iwu a **unu gwarita ibe-unu**, nke a kwekọkwara n'ihe ndị okenye na Ndị Kraịst ibe ha kwesịrị ikpe n'ekpere ( **nēkpe kwa ekpere n'ihi ibe-unu**) ka Chineke gwọọ onye ahụ na-arịa ọrịa.

O yiri ka James anaghị eche n'amaokwu nke 14-15 banyere ịgwọ ọrịa ozugbo ndị okenye kpesịrị ekpere. Kama nke ahụ, ọ na-eche banyere ekpere a bakọtara aka kpe, ma nke ndị okenye ma nke ọgbakọ, ọ na-echekwa banyere ọgwụgwọ ga-adịgide adịgide, ọ bụghị mgbake nke na-eme ozugbo mgbe ahụ. Ma ọ bụrụ na onye ahụ na-arịa ọrịa nwere ihe mere ọ ga-eji kwere na aka Chineke nke na-enye ịdọ aka ná ntị dị n'ahụ ya, o kwesịrị ịdị njikere ikweta n'ihu ọha na ya emehiewo ka o wee nwee ike imepe ụzọ maka ekpere dị ire.

Ekpere *pụrụ* ịrụ ọrụ ebube! Otú ọ dị, ọ gaghị adị otú ahụ ma ọ bụrụ na o sitere n'obi na-ezighị ezi, ma ọ bụ bụrụ nke na-adịghị ewuli elu, nke na-enweghị isi, na nke elu ọnụ. Kama nke ahụ, ọ na **lusi-ọlu-ike** mgbe ọ bụ ekpere **dị irè, nke sitere n'obi** nke **onye ezi omume** kpere. Okwu ndị bụ́ irè, na-inụ ọkụ n'obi na-asụgharị otu ụdị ngwaa Grik (*energoumenē*) bụ́ nke siri ike ịsụgharị kpọmkwem n'asụsụ Bekee. Okwu Bekee ndị a maara nke ọma nke NKJV ji mee ihe ziri ezi, ma ebe ọ bụ na ngwaa ahụ "energize" sitere na ngwaa Grik a na-ekwu okwu ya, a pụrụ ịkọwa okwu Jemes dị ka "ekpere siri ike n'ụzọ ime mmụọ" ma ọ bụ "ekpere nke Chineke nyere ike." Isi ihe dị na ya bụ na ekpere dị otú ahụ na-arụ ọrụ n'ụzọ miri emi karịa ekpere ndị a na-ekpe n'obi na-enweghị mgbalị na mmasị. Jemes na-ekwu banyere ekpere sitere n'ike mmụọ nsọ na nke sitere n'obi na mmụọ. Ọ bụ nanị onye ezi omume pụrụ ikpe ekpere dị otú ahụ, n'ihi ya, Jemes na-enye echiche na ọ bụrụ na onye ahụ na-arịa ọrịa echegharịa n'ezie ná mmehie ọ bụla o mere, ọ pụrụ ọbụna ikpe ekpere n'ụzọ dị irè maka onwe ya. N'ezie, nke a bụ kpọmkwem ihe Eze ezi omume bụ́ Hezekaịa mere

n'oge ọrịa na-achọ igbu ya (2 Ndị Eze 20:2-6), ọ bụ ezie na ọrịa ya enweghị ihe jikọrọ ya na mmehie ruo n'ókè a maara.

**5:17**. Dị ka ihe atụ a ma ama nke "ekpere siri ike nke onye ezi omume na-ekpesi ike", ugbu a Jemes na-akpoghachị uche na **Ịlaịja**, [onye] **bu madu yiri ayi n'aru-ya**. Ọ bụrụ na a nwara ndị na-agụ akwụkwọ ya iche na *Ịlaịja* bụ ụdị onye karịrị mmadụ n'ụzọ ime mmụọ bụ́ onye a na-apụghị imeghachi omume ná ndụ ekpere ya, ha hiere ụzọ. *Ịlaịja* bụ mmadụ dị ka anyị, ma ekpere o kpere mere ka mmiri ghara izo **ruo arọ atọ na ọnwa isi.** Mgbe Jemes na-ekwu na *Ịlaịja... kpesiri ekpere ike,* o ji okwu sitere n'okwu ndị Hibru mee ihe. Okwu Grik (*proseuchē prosēuchato*) pụtara n'asụsụ kpọmkwem "ọ kpere ekpere," ma a pụrụ ịkọwa ha "ọ kpere ekpere n'ezie." Ntughari a, dị ka NKJV na-atụ aro, bụ echiche ahụ a kpọtụrụ aha na mbụ nke "ekpere dị irè, nke siri ike" (amaokwu 16). Okwu Jemes ji mee ihe n'ebe a bụ ụzọ isi kwuo na ọ bụ kpọmkwem ụdị ekpere ahụ ka *Ịlaịja* kpere. Ihe ndị ọ rụpụtara gosiri na ekpere ya nwere nnukwu ike.

**5:18**. Ma nke a abụghị naanị otu oge *nwoke eziomume* a kpere ekpere. Kama nke ahụ, ***o kpere ekpere ọzọ***, ekpere ya metụtakwara ma **eluigwe**, nke ***mere ka mmiri zoo***, ma **ụwa**, nke mere ka **ala we mia nkpuru-ya**. Ya mere, Jemes na-atụ aro na ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ ya, n'otu aka ahụ, pụrụ ịrụzu ihe dị ukwuu (lee *uru dị ukwuu* n'amaokwu nke 16) ma ọ bụrụ na ha bụ ndị ezi omume bụ́ ndị na-ekpesi ekpere ike.

Jemes agafeela isiokwu ọrịa, bụ́ nke malitere okwu ya banyere ekpere (amaokwu nke 16). Ịgwọ ọrịa anụ ahụ́ bụ nanị otu n'ime ihe ndị pụrụ isi n'ekpere dị irè pụta. Dika onye obula chetara akuko nke Ilaija mara, ekpere nke onye amuma a bu ihe Chineke ji mee ihe n'ihe banyere oku Ya maka ncheghari nke ndi Ya Israel (1 Ndi Eze 18). Ekpere nke mechiri eluigwe mere ka Chineke dọọ Izrel aka ná ntị, ebe ekpere nke meghere ya meghere ụzọ wetara ha ngọzi Chineke. Ma nke a mere naanị mgbe mba ahụ chegharịrị ma hapụ ofufe Baal. Ya mere , Ịlaịja emeela ka mba dum hapụ njehie nke ụzọ ya (v 20). Ohere ndị yiri nke ahụ na-echere ekpere ndị na-agụ akwụkwọ Jemes nwekwara ike ikpe ekpere.

**5:19**. A na-eme ka eziokwu a doo anya ugbu a n'okwu mmechi nke akwụkwọ ozi a (v 19-20). N'ezie, e kwesịghị ịgụ okwu a iche n'ihe anyị tụleworo banyere ekpere. Jemes ekpughewori eziokwu ahụ bụ́ na a pụrụ inwe ndị ọrịa n'etiti ọgbakọ ndị ọ na-agwa okwu bụ́ ndị ikpe mmehie mara, nakwa na a pụrụ igbo mkpa ha site n'ekpere. Ma e nwekwara ike inwe ndị ọzọ pụrụ ịkpafu n'ụzọ ime mmụọ, bụ́ ndị ọ pụrụ ịbụ na ha adịghị arịa ọrịa ọ bụla n'ụzọ anụ ahụ. Jemes kwetara nke ọma na mmehie dị, ma ọ dị nwute na ọ bụ ihe a na-ahụ na ndụ Ndị Kraịst. N'ihi ya, ọ na-atụ aro na onye **ọ bula n'etiti unu si n'ezi-okwu jehie**, onye ọ bụla n'ime ndị na-agụ akwụkwọ ya pụrụ ịghọ onye ga-eme me **ka o chigharia**, dị ka Ịlaịja mere n'ebe Izrel nọ. Ọ dịghị mkpa ka Jemes kwuo na a pụghị ime nke a n'ekpeghị ekpere. Ịlaịja bụ ihe nlereanya doro anya nke mgbalị mweghachi dị otú ahụ.

**5:20**. Mgbalị ndị a bara uru. N'ezie, **onye meworo ka onye-nmehie si na njehie nke uzọ-ya chigharia** (*hodou*, "ụzọ") na-eme n'ezie ka ọ hapụ ụzọ mmehie nke pụrụ iduga ya n'ọnwụ nke anụ ahụ ya (lee 1:15). N'ihi ya, mgbalị onye Kraịst ime ka nwanna ya laghachi n'ụzọ nrubeisi bụ ọrụ na-azọpụta ndụ. Ọ bụrụ na o nwee ihe ịga nke ọma, ***ọ ga-azọpụta mkpụrụ obi*** (psychē, "ndụ," "onye") **n'ọnwụ**. Ma ọ ga-eme ihe karịrị nke ahụ, ebe ọ bụ na onye mmehie e weghachiri eweghachi na-enweta mgbaghara Chineke na-enye n'ụba. N'ihi ya, a na-ewepụcha ọtụtụ mmehie ndị mmadụ mehiere ma kwalite n'ihi isi n'ebe Chineke nọ wezụga onwe ha mgbe onye ahụ laghachiri n'ebe Chineke nọ. Okwu a sụgharịrị n'ebe a bụ ihe mkpuchi (*kalypsei*) pụtara "**kpùchi**". **Ọtụtụ mmehie** nke onye mmehie ahụ bụ nke na-apụtaghị ìhè ọzọ site na mgbaghara o nwetara. A na-atụkwasịkwa nwanna ahụ na-ahụ n'anya nke na-eme ka ọ laghachi azụ ọ bụghị nanị na o chebere ndụ Onye Kraịst ibe ya, kamakwa na o mere ka ọ dị ọcha, dị ka a ga-asị na mgbalị ya ewepụwo n'anya ihe nile na-adịghị mma omume nke mmehie na-emepụta, (ọ bụ ezie na, n'ezie, ọ bụ nanị Onyenwe anyị na-eme ka mmadụ dị ọcha n'ezie). N'ihi itinye aka dị otú ahụ n'onwe ya, Onye Kraịst ahụ mehierenụ na-adị ndụ n'ụzọ anụ ahụ ma dị ọcha n'ụzọ ime mmụọ**.**

N'ebe a ka akwụkwọ ozi ahụ gwụrụ. Ma n'ụzọ ọ bụla, nke a abụghị njedebe dị larịị ma ọ bụ nke na-adịghị mma. N'ụzọ megidere nke ahụ, n'okwu mmechi ya na-akpali

akpali (5:7-20), Jemes emewo ka ndị na-agụ ya si n'ọnọdụ nke ịtamu ntamu megide ibe ha (v 9), ruo n'inwe nchegbu ịhụnanya maka mkpa anụ ahụ nke ibe ha (lee v 16), ruo n'ọnọdụ kasị elu: nchegbu banyere mmehie nwanna (vv 19-20). Mgbe ndị kwere ekwe ruru n'ọnọdụ a, ha emeriwo n'ezie nchegbu ha na-enwe banyere ọnwụnwa na ule nke ha. Ugbu a, ha lekwasịrị anya ná mkpa ime mmụọ nke ụmụnna ha ndị nwoke na ndị nwanyị, obi ha na-ebuli elu n'ekpere maka ha, ha na-esetịpụkwa aka ha iji dọta ha ịlaghachi n'ụzọ ziri ezi.